COURSE GUIDE

# IGB 215
# MKPỌLITE AGỤMAGU ỌNỤ IGBO
# (INTRODUCTION TO IGBO ORAL LITERATURE)

**Course Team**

PrQfesQ Iwu IkwubụzQ Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Asụsụ ndi Afrịka na Asia Mahadum Lagos, Naịjiria and Asian Studies, University of Lagos, Nigeria).

PrQfesQ Herbert S. Igboanusi (Onye Òdezi Iheọmụmụ) Ngalaba Amụmamụ Asụsụ na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Naịjirịa (University of Ibadan, Nigeria).

PrQfesQ Herbert S. Igboanusi (Onye Nchịkwa Iheọmụmụ) Ngalaba Amụmamụ Asụsụ na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Naịjirịa (Dept. of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Nigeria)

Mazi Chukwuemeka Nwosu - (Onye Òdezi Iheọmụmụ) - NOUN

NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA

© 2023 by NOUN Press
National Open University of Nigeria
Headquarters
University Village
Plot 91, Cadastral Zone
Nnamdi Azikiwe Expressway
Jabi, Abuja

Lagos Office
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island, Lagos

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

All rights reserved. No part of this book may be reproduced, in any form or by any means, without permission in writing from the publisher.

Printed: 2023

ISBN: 978-978-058-138-1

## Mkpọlite

IGB 215 *Mkpọlite Agụmagu Ọnụ Igbo* bụihe ọmụmụotu simesta, nke nwere yunitihe ọmụmụatọ maka ndị nọ n'ihe ọmụmụafọ nke abụọ.
E mebere ya maka ụmụakwụkwọ ndịihe ọmụmụha bụ Igbo kpọmkwem.
Ihe ọmụmụa nwere yunitiri na anọ nke chịkọtara maọbụ kpokọtara mkpọlite ihe niile gbasara IGB 215.

## MkpọliteIhe Ọmụmụ IGB 215

Ịkpọlite maọbụ idubanye ụmụakwụkwọ n'agụmagụọnụ (ọdịnala) Igbo dị mkpa na mmalite ihe ọmụmụgbasara agụmagụọnụ ka ha nwe ike ịghọta ntọala ya nke ga-enyere ha aka ịmata ihe a na-akọ na ya bụ ihe ọmụmụn'ọdịnihu. A kwadoro ngwa ihe ọmụmụ a site n'agụmagụọnụndị Igbo ndị a tụrụ anya na ha ga-abara ụmụakwụkwọ Igbo uru.

Akwụkwọ ntụziaka kọọsụ a ga enye aka n'ebe ọ dị mfe ịkọwapụta ihe ihe ọmụmụa bụ, ngwa nkụzi ihe ndị dị mkpamaka ihe ọmụmụa na etu ngwa nkuzi a ga-esi bụrụ ihe bara uru. O nyere ntụziaka maka oge a tụrụ anya aga e ji mụọ yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla. O nyekwara ntụziaka dịka osi metụta nnwàle/iheomume onyenkụzi ga-amaakị. Ọ bụ ihe dị oke mkpa na ị ga na-aga ihe ọmụmụndị achịkọbara; ka gị na ndị nkụzi/ntụziaka gị wee nwee ntụlerịkọta uche maka ihe ndị gbagwojuru gị anya.

## Mbunuche Izugbe

Mbunuche izugbeihe ọmụmụa bụiji mee ka nwatakwụkwọ mụọ n'ụzọ dị omimi ihe gbasara agụmagụọnụ, ọkachasịnke ndị Igbo. Ihe ndị e kwesịrị ịmụ n'ihe ọmụmụa gụnyere:

1. Ilebanye anya n'agụmagụọnụ dịka otu nkewaagụmagụ;
2. ỤdịagụmagụọnụIgbo e nwegasịrị, ya bụ, nkenụdịagụmagụọnụ Igbo;
3. Itụle njirimaraagụmagụọnụ; ihe ntụfu dị na nchịkọta na ndetu agụmagụọnụ n'akwụkwọ
4. Ilebami anya na ndịnaụdị agụmagụọnụIgbo e nwegasịrị, ya bụ, abụ ọnụ, akụkọ ọdịnala Igbo na ejije ọdịnala Igbo;
5. Inyocha ọdịdịagụmagụọnụ dịka o si metụtaabụ ọnụ, akụkọ ọdịnịgha ọdịnala Igbo na ejije ọdịnala Igbo.

## Mbunuche Kpọmkwem

E nwere mbunuche a tụrụ anya a ga-enweta site na yunit nke ọbụla n'ime yunit iri na anọ dị na kọọsụ a. I kwesịrị ịgụmbunuche ndị a tupu

ịmalite ihe ọmụmụ yunit nke ọbụla.A tụrụ anya n’oge ị mụchara ihe ọmụmụ a, na ị ga-enweike:

- kọwapụta n’uju ihe agụmagụ ọnụ pụtara na nkenụdị ya;
- kwuo ụdịagụmagụ ọnụ e nwegasịrị n’Igbo;
- kọwapụta n’ụzọ doro anyanjirimara agụmagụ ọnụ na adịmiche dị n’etiti agụmagụ ọnụ na agụmagụederede Igbo;
- kọwaa ụdịihe ntụfu dị na nchịkọta na ndetu agụmagụ ọnụ n’akwụkwọ
- maraihe a na-atụle na ndịna agụmagụ ọnụ;
- marakwa ihe a na-enyochan’ọdịdịagụmagụ ọnụ.

**Nkọwa Ihe Ọmụmụ**

Iji mechaa kọọsụ a, ọ dị mkpa na ị ga-amụ ma gụọyunitihe ọmụmụniile, gụọ akwụkwọ niile e wepụtara maka ihe ọmụmụ, tinyere ngwa ihe ọmụmụ ndị ọzọ dịka NOUN sinye ntụziaka.Yunit nke ọbụla nwere ọtụtụ ihe nnwàle nke onwe.Ka ihe ọmụmụ a na-aga n’ihu, o nwere oge a ga-atụanya ka ị webata ọrụ nnwàle gị maka nleba anya. Na ngwụcha ihe ọmụmụIGB 215: MKPỌLITE AGỤMAGU ỌNỤ IGBO (INTRODUCTION TO IGBO ORAL LITERATURE), a ga-enwe ule ikpeazụ.Ihe ọmụmụa kwesiri iwe ihe dịka izuụka iri abụọ ka e wee mụchaa ya. Ị ga-ahụ ebe e depụtara ihe ndị mejupụtara ihe ọmụmụ a n’okpuru. Ị ga-ekewapụta oge maka yunit nke ọbụla ka i weenwe ike imecha ihe ọmụmụa nkeọma nakwa n’oge a tụrụ anya.

**Ngwa Ihe Ọmụmụ**

Ngalaba maọbụ mmewereihe ọmụmụ a ndị kachasịdị elu gụnyere:

1. Yunit Ihe Ọmụmụ
2. AkwụkwọỌgụgụ
3. FaịlụNtinye Ihe Omume
4. Usoro a ga-agbaso wee mee ihe

**Yunit Ihe Ọmụmụ**

E nwere yunit ihe ọmụmụ iri na anọ na kọọsụa ndị gụnyere:


| | |
|---|---|
| **Modul 1** | **MKPỌLITE**: |
| Yunit 1 | Gịnị bụ Agụmagụ? |
| Yunit 2 | Gịnị bụ Agụmagụ Ọnụ Igbo? |
| Yunit 3 | Ọnọdụ Na-ewepụta Agụmagụ ỌnụIgbo |
| Yunit 4 | Ndịiche Agụmagụ Ọnụ na Agụmagụ Ederede na Mbamụrụ Agụmagụ Ọnụ Igbo |
| **Modul 2** | **NjirimaraAgụmagụ Ọnụ** |
| Yunit 1 | Èchepụ̀tàrànisi/Èkwùrùnọnụ̄ |
| Yunit2 | Mgbadoụ̄kwụ Mmemme n’Èkwùrùnọnụ̄ |

Yunit 3 Nnyefè/Mgbasà
Yunit4 Nchịkọta, NdetùAgụmagụ Ọnụ na Ihe Ntụfù dị ya

**Modul 3 Nkenụdị Agụmagụ Ọnụ**
Yunit 1 Abụ Ọnụ
Yunit 2 Akụkọ/Ọdịnịgha Ọdịnala
Yunit 3 Ejije/EgwuregwuỌdịnala

**Modul 4 NnyochaAgụmagụ Ọnụ**
Yunit 1 Nnyocha AbụỌnụ
Yunit 2 NnyochaAkụkọ/Ọdịnịgha Ọdịnala
Yunit 3 Nnyocha Ejije/EgwuregwuỌdịnala

Modul 1 bụmkpọlitemaọbụndubanyen’ihe bụ agụmagụ na agụmagụ ọnụ Igbo,ọnọdụ na-ewepụtaagụmagụ ọnụIgbo,ndịiche agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede, na mbamụrụ agụmagụ ọnụIgbo. Modul 2 lebanyere anya nanjirimara agụmagụ ọnụ.Modul 3mere nkenụdị agụmagụ ọnụ, ebe Modul 4 lebanyere anya nannyocha ụdịrị agụmagụ ọnụ ndị ahụ e nwere n’otu n’otu.

E nwere yunit iri na anọ n’iheọmụmụ(kọọsu) a. Ihe mejupụtara yunitihe ọmụmụ nke ọbụla bụihe ọmụmụ otu izuụka nke gụnyere ihe kachasị mkpa a tụrụ anya na-a ga amụta, usoro a ga-agbaso wee mụọ ihe, ngwa ihe ọmụmụndị a ga-e ji amụ ihe, na ihe nnwàle nke onwe. Tinyekwara ihe omume onyenkụzi ga-amaakị, ọ bụ ihe ndị a niile ga-enyere gịaka iji nweta mbunuche e ji wee mebe yunitihe ọmụmụ nke ọbụla na nke kọọsu a,ihe ọmụmụ nkụzi a n’ozuzu oke.

## Akwụkwọ Ọgụgụ na Nrụtụaka

Ngwa ihe ọmụmụ bụ ihe kachasị mkpa e nwere maka kọọsụ a. N’agbanyeghị nke a, i nwekwara ike ịgụ akwụkwọ ọgụgụ ndị ọzọ, ndị e wepụtara dịka ihe nrụtụaka.

## Nnwale

E nwere usoro nnwàle n’ihe ọmụmụ a; ihe omume onyenkụzi ga-amaakị na ule nke a ga-ède ede. N’ime ihe omume ndị a, a tụrụanya na ị ga-etinye ihe ndị ị mụtara oge i na-eme ihe ọmụmụ n’ọrụ.
Ị ga-enyerịrịonyenduziihe ọmụmụihe omume gịka o wee nwee ike ịnwale gị dịka oge e nyere na usoro akwụkwọ faịlụ si dị.
Ọrụ nke ị ga-enye onyenkụzi maka nnwàle ga-ebu maakị iri atọ n’ime maakị niile kọọsụ ahụ nwere.

## Ihe Omume

E nwere ihe omume onyenkụzi ga-elenye anya na ngwụsịyunit nke ọbụla. A tụrụ anya na ị ga-eme ihe omume niile ndị ahụ. A ga-eme gị nnwàle na ha niile, mana atọ ndị kacha mma bụ ndị a ga-ewere maka nnwàle ugboro ugboro.Nnwàle ọbụla bu maakịpesenti iri (10%).Oge i mechara nnwàle nke ọbụla, were ya na fọm nnwàle nke onyenkụzi ga-amaakị wegara onyenduzi iheọmụmụ. Gbaa mbọ hụ na nnwàle ọbụla rutere onyenduzi ihe ọmụmụ gị aka tupu ụbọchị e nyere maọbụ ụbọchị e nyere kpọmkwem.Ọ bụrụ na o nwere ihe ọbụla ga-eme na ị gaghị emecha ọrụ gị; gbaa mbọ hụ na onyenduzi iheọmụmụmaara maka ya tupu ụbọchị e nyere maka iwebata ọrụ ndị ahụ eruo, ka gị na ya kparịta ma onwere ike inyetụkwu gịoge . A gaghị agbatị maọbụ nyekwa oge ọzọ, ma e wepụ n'ọnọdụ enweghịzị ihe a ga-eme maka ya.

**Ule na Enyemmaakị**

Ule ikpeazụ maka IGB 215 ga-abụ awa abụọ. O ga-ebu pesent iri asaa(70%) n'ime maakị niile ekwesiri inwe n'ihe ọmụmụ a.

Ihe ga-emejupụta ule ga-abụ ajụjụ ga-egosipụta ụdị nnwalenke e nwere n'iheomume nke onwe na ihe omume nke onyenkụzi ga-amaakị nke e merela. Ajụjụ nnwàle ga-emetụcha aka n'ihe niile e jiri mụọ ihe. Ị ga-ewere ohere dị n'etiti oge i jiri mechaa yunit nke ikpeazụ na oge dị tutu ule amalite wee lebagharịa anya ọzọ n'ihe niile i mere na kọọsụ a.I nwekwaraike lebanye anya ọzọ n'ọrụ nnwale nke onwe na ihe omume onyenkụzi lebara anya tupu ule amalite.

**Usoro Enyemmaakị**

Tebùl a na-esotenu gosipụtara etu e siri wee kerisie maakị ule kọọsụ a.

| **Nnwale** | **Maaki e nyere** |
|---|---|
| Ihe omume 1-4(Nnwàle atọ a họpụtara kacha mma n'ime nnwaleniile nke ọbụla bu maakị10% onyenkụzi nyerela) | . Mkpokọta ha niile nyere pesent iri atọ (30%). |
| Ule ikpeazụ | Pesenti iri asaa (70%) na maakị niile ihe ọmụmụ bu. |
| Mgbakọta ihe niile | Otu narị pesenti (100%)bụ maaki iheọmụmụbu |

**Ndịna Ihe Ọmụmụ**


| Yunit | Isiokwu Iheọmụmụ | Iheomume n’Izuụka | Ihe omume Onyenkụzi ga-amaakị |
|---|---|---|---|
| | Ntụziaka maka kọọsụ a | 1 | |
| **Modul 1** | | | |
| 1 | Gịnị bụ Agụmagụ? | 2 | |
| 2 | Gịnị bụ Agụmagụ Ọnụ Igbo? | 3 | |
| 3 | Ọnọdụ na-ewepụta Agụmagụ ỌnụIgbo | 4 | |
| 4 | Ndịiche Agụmagụ Ọnụ na Agụmagụ Ederede na Mbamuru Agụmagụ Ọnụ Igbo | 5 | TMA 1 |
| **Modul 2** | | | |
| 1 | Èchepụ̀tàrànisi/Èkwùrùnọnụ̄ | 6 | |
| 2 | Mgbadoụ̄kwụ Mmemme n’Èkwùrùnọnụ̄ | 7 | |
| 3 | Nnyefè/Mgbasà | 8 | |
| 4 | Nchịkọta, NdetùAgụmagụ Ọnụ na Ihe Ntụfù dị ya | 9 | TMA 2 |
| **Modul 3** | | | |
| 1 | Abụ Ọnụ | 10 | |
| 2 | Akụkọ/Ọdịnịgha Ọdịnala | 11 | |
| 3 | Ejije/EgwuregwuỌdịnala | 12 | TMA3 |
| **Modul 4** | | | |
| 1 | Nnyocha AbụỌnụ | 13 | |
| 2 | NnyochaAkụkọ/Ọdịnịgha Ọdịnala | 14 | |
| 3 | Nnyocha Ejije/EgwuregwuỌdịnala | 15 | TMA 4 |
| | Nlebagharịanya n’ihe a mụrụ | 16 | |
| | Ule | 17 | |
| | Mgbakọta | 18 | |
| | | | |


**Ka ị ga-esi ritekarịcha uru Ihe Ọmụmụa**

N’ihe ọmụmụnke a ebe ụmụakwụkwọ na ndịnkụzi nọsara anọsa,yunitihe ọmụmụ ga-anọchiteanya onyenkụzi mahadum. Uru dị n’ụdị ihe ọmụmụa bụ na i nwereike ịgụ akwụkwọ ma lebakwa anya na ngwa iheomụmụ gị n’usoro ọmasịrị gị, n’oge na n’ebe kachasị dị gị mma. Hụta ya dịka ịgụ

ihe sitere na nkụzi ihe kama igere onyenkụzi. Dịka onyenkụzi nwereike inye gị iheomume na klaasị, yunit ihe ọmụmụ bụ iheomume ị ga-eme n'oge o kwesịrị.
Yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla gbasoro otu ụdị usoro. Ihe nke mbụ bụ ndubanye n'isiokwu maọbụ mkpọlite isiokwu nke yunit ahụ na etu otu yunit nke ọbụla si wee metụta yunit ndị ọzọ na kọọsụ ahụ n'ozuzuoke. Nke na-esote ya bụrụ mbunucheihe ọmụmụe nwegasịrị. Mbunuche ihe ọmụmụbụ ihe ga-enyere gị aka iji mata ihe i kwesiri imesi tupu ịbịa na njedebeihe ọmụmụgị. Ị ga-ewere mbunuche iheọmụmụndị a dịka ihe ga-eduziihe ọmụmụgị. Oge i mechara ihe dịna yunit a, ị ga-alaghachị azu, tụlee ma I nwetakwara ihe ndị ahụe bu n'uche na ị ga-enweta tupu ihe ọmụmụyunit a agwụchaa. Ọ bụrụ na ị na-eme nke a kwa mgbe kwa mgbe ị ga-ewelite, n'ụzọ di elu, ohere i nwere ịgafe n'ule,ya bụ, ime nke ọma n'ihe ọmụmụa.

E tinyekọtara nnwàle onwe n'ime yunit nke ọbụla; e nyekwara azịza ha na njedebe kọọsụ a. Ime nnwàle ndịa ga-enyere gị aka inweta ihe e bun'uche nayunit ihe ọmụmụma kwadokwa gịmaka ihe omume na ule. Ị ga-eme nnwàle onwe ọbụla ebe ọbụla ịhụrụ ya na yunit ihe ọmụmụ a. A ga-enwegasị ọmụmaatụyunit ihe ọmụmụ a. Mee nke ọbụla oge i rutere na ya.

**Ndị Nduzi na Nkuzi**

E wepụtara awa asatọ maka nkwado ihe ọmụmụkọọsụ a.
A ga-eme ka ị mata ụbọchị, oge na ebe a ga-anọ eme ihe ọmụmụndị a, tinyekwara aha, akara ekwentị onyenduzi gị ozigbo e nyere gị òtù ị ga-esonye maka ihe ọmụmụa.

Onyenduzi unu ga-etinye maakị ole i nwetara na ihe omume gị, tinyekwa anya n'ọganihu maọbụ nsogbu ọbụla ị nwere ma nyere gị aka oge a na-eme kọọsụ a.

Ị ga-ezigara onyenduzi ihe ọmụmụihe omumegịonyenkuzi ga-amaakị n'ezi oge tupu ụbọchị e wepụtara maka ime nke ahụ. Onyenkuzi gịga-enye maakị inwere ma zighachịrị gị ya n'oge na-adịghị anya.

Atụfula oge ịkpọtụrụ onyenkuzi gịmaọbụ degara ya ozi n'emeel ma ọbụrụ na:

- ị ghọtaghị akụkụ ọbụla na yunit ihe ọmụmụ maọbụ
- i nwee mgbagwojuanya n'ọrụ nnwale onwe.
- o nwere ajụjụ maọbụ nsogbu i nwere n'ihe omume, ihe onyenkuzirụtụrụ aka n'ihe omume gịmaọbụ etu e siri gụgharịaihe omume gị nye ya maakị ruuru ya inweta.

Ị ga-agbalịsi ike ịgasonye n'ihe ndị a na-akụzi na klaasị.Nke a bụ naanị ohere i nwere ịhụ onyenkuzi gị ihu na ihu ma jụkwaa ya ajụjụ nke a ga-

enweta ọsịsa ya ozigbo ahụ. I nwere ikeijụ ajụjụ metụtara nsogbu ọbụla cheere gị aka mgba mgbe ị na-emeihe ọmụmụgị. Iji rite ezigbo uru na nkuzi a, gbaa mbọdetucha ajụjụ ọbụla i nwere n'akwụkwọ tupu ị gaba n'ebe a ga-anọ kụzie ihe. Ị ga-amụta ọtụtụ ihe ma ọ bụrụ na i sonye nke ọma.

**Nchịkọta**

Mbunuche IGB 215 bụiji kwado gị inwe ike ime ntụle agụmagụ ọnụ site n'idubanye gị n'ihe ndị dị mkpa i kwesịrị ịma.Nammecha kọọsụ a, ị ga-enwe nghọta ga-edu gị ịkọwa ihe bụ agụmagụna ụdịrị agụmagụ e nwere. I ga-enwe ike ịkọwa adịmiche dị n'etitiagụmagụ ọnụna agụmagụ ederede Igbo. Ị ga-enwekwa ike ikwu njirimara agụmagụ ọnụ Igbo na nkenụdị ya. Ị ga-amarakwa na ugbua a e nwekwara ike ịchịkọta agụmagụ ọnụ, bipụta ya n'akwụkwọ mana ozigbo e deturu agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ, a na-enwe ọtụtụ ihe ntụfùn'ihi ụfọdụ njirimara agụmagụ ọnụ enweghị ike idetu edetu. Ị ga-aghọtami ihe gbasara nkenụdị agụmagụ ọnụ Igbo- abụ ọnụ, akụkọ ọdịnịgha ọdịnala (ifo, nkọmịrịkọ, nkọkịrịkọ na ụkabụilu) na ejije ọdịnala.

Ị ga-amụtakwa ihe gbasara nnyocha agụmagụ, ihe ndị a na-agbado ụkwụ eme nnyocha agụmagụ ọnụ, na ihe ndị e kwesiriilebagasị anya na ya bụ nnyocha agụmagụ ọnụ Igbo.

Ana m asị ya dịrị gị na mma n'ihe ọmụmụa, na-atụkwa anya na ị ga-enwe mmasị naya, sitekwa naya nwe mbawanye amamihe n'ihe gbasara agụmagụ ọnụ Igbo.

# MODULE 1 MKPỌLITE AGỤMAGỤ ỌNỤ

## UNIT 1 GỊNỊ BỤ AGỤMAGỤ?

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọmkwem
1.4 Nkọwa Agụmagụ
1.5 NkenụdịAgụmagụ
1.6 NgosipụtaNkenụdịAgụmagụ n'Eserese
1.7 Nchịkọta
1.8 Nrụtụaka/Ngụmi
1. 9 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ



### 1.1 MKPỌLITE

IGB 215 Mkpọlite Agụmagu Ọnụ Igbo bụ ihe ọmụmụ otu simesta, nke nwere yunit ihe ọmụmụ atọ maka ndị nọ n'ihe ọmụmụ afọ nke abụọ.

E mebere ya maka ụmụakwụkwọ ndị ihe ọmụmụ ha bụ Igbo kpọmkwem.
Ihe ọmụmụa nwere yunit iri na anọ nke chịkọtara maọbụ kpokọtara mkpọlite ihe niile gbasara IGB 215.

Ịkpọlite maọbụ idubanye ụmụakwụkwọ n'agụmagụọnụ (ọdịnala) Igbo dị mkpa na mmalite ihe ọmụmụgbasara agụmagụọnụ ka ha nwe ike ịghọta ntọala ya nke ga-enyere ha aka ịmata ihe a na-akọ na ya bụ ihe ọmụmụn'ọdịnihu. A kwadoro ngwa ihe ọmụmụ a site n'agụmagụ ọnụ ndị Igbo ndị a tụrụ anya na ha ga-abara ụmụakwụkwọ Igbo uru.

Akwụkwọ ntụziaka kọọsụ a ga enye aka n'ebe ọ dị mfe ịkọwapụta ihe ihe ọmụmụa bụ, ngwa nkụzi ihe ndị dị mkpamaka ihe ọmụmụa na etu ngwa nkuzi a ga-esi bụrụ ihe bara uru. O nyere ntụziaka maka oge a tụrụ anya aga e ji mụọ yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla. O nyekwara ntụziaka dịka osi metụta nnwàle/ihe omume onye nkụzi ga-amaakị. Ọ bụ ihe dị oke mkpa na ị ga na-aga ihe ọmụmụ ndị achịkọbara; ka gị na ndị nkụzi/ntụziaka gị wee nwee ntụlerịkọta uche maka ihe ndị gbagwojuru gị anya. Iji mechaa ihe niile na kọọsụ a, ọ dị mkpa na ị ga-amụ ma gụọ yunitihe ọmụmụ niile, gụọ akwụkwọ niile e wepụtara maka ihe ọmụmụ, tinyere ngwạ ihe ọmụmụ ndị ọzọ dịka NOUN si nye ntụziaka.Yunit nke ọbụla nwere ọtụtụ ihe nnwàle nke onwe.Ka ihe ọmụmụ a na-aga n'ihu, o nwere oge a ga-atụanya ka ị webata ọrụ nnwàle gị maka nleba anya. Na ngwụcha ihe ọmụmụ Igb 215: mkpọlite agụmagu ọnụ Igbo (Introduction to Igbo oral literature), a ga-enwe ule Ikpeazu. Ihe ọmụmụa kwesiri iwe ihe dịka izuụka iri abụọ ka e wee mụchaa ya. Ị ga-ahụ ebe e depụtara ihe

ndị mejupụtara ihe ọmụmụ a n'okpuru. Ị ga-ekewapụta oge maka yunit nke ọbụla ka i weenwe ike imecha ihe ọmụmụa nkeọma nakwa n'oge a tụrụ anya.

## 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- kọwapụta ihe bụagụmagụdịka osi metụta ihe ọmụmụa
- kwuo ụdị agụmagụe nwere
- nwee nghọta miri emi gbasara agụmagụ ọnụ (ọdịnala)

## 1.3 Ndịna kpọmkwem

## 1.4 Nkọwa Agụmagụ (Gịnị bụ Agụmagụ?)

Mgbe anyị na-ekwu maka agụmagu, o kwesịrị ka e bụrụ n'uche na okwu a bu 'agụmagu' pụtara 'literature' na Bekee.

N'echiche ụfọdụ mmadụ, 'agụmagụ' bụ okwu chịkọtara ụzọ niile ndị Igbo si egosipụta nkwenye ha nakwa omenala ha dị iche iche. N'oge ochie, mgbe ụwa ndị Igbo ka nọ n'anya ìsì, ndị Igbo na-eji akụkọ dị icheiche egosipụta nkwenye ha n'ihe ụfọdụ nke gbasara etu ụwa siri malite, etu ihe ụfọdụ siri malite, nakwa nghọta ha banyere Chukwu. Mgbe ha rụchara ọrụ, ha na-ejikwa egwu dị icheiche anọrị oge. Ọtụtụ mgbe, a na-agụ egwu ndị a, a na-agba ya agba, ma na-ejijekwa ụfọdụ ndị n'obodo maọbụkwanụ ụfọdụ ihe. Ihe mere ha ji eme ihe ndị a niile bụ iji kpaa onwe ha obiụtọ, kuzie ihe ma chebakwa omenala ha n'ụdị na ụmụ ha na-amụta ihe ha na-eme ma na-akuzikwara ya ụmụ nke ha ma ha tolite.

Mana nkọwa a e nyere n'elu akọwachaghị ihe agụmagụ bụ kpọmkwem. Agụmagụ enweghị otu ụzọ e nwere ike isi kọwaa ya n'ụdị na ọ ga-achịkọta uche mmadụ niile ebe ọ bụ na agụmagụ na-arụtụkarị aka n'etu ndị mmadụ si ezipụta ihe ha bu n'uche.

E nwere ike ịkọwa ihe agụmagụ pụtara n'ụzọ dị iche iche: N'otu aka, e nwere ike ịsị na agụmagụ bụ ọrụaka nke odee.

N'aka nke ọzọ, e nwere ike ịlegakwara agụmagụ anya dịka edemede niile nke otu oge, obodo, dgz, tụmadị ndị ahụ bụ ọrụ ekèrèuchè si n'enyouche nke mmadụ, ya bụ, ihe ọbụla mmadụ si n'isi ya chepụta,

kwupụta n'ọnụ nkịtị maọbụ depụtakwa ya n'akwụkwọ, ma e dere ya na Bekee ma e dere ya n'Igbo dịka abụ, iduuazị, ejije. E nwekwazịrị ike ịkọwa agụmagụ dịka edemede niile e nwere metụtara otu isiokwu (subject) maọbụ akaọrụ mmadụ. N'ebe a anyị nwere ike ikwu maka agụmagụ gbasara ahụike (medikal literechọ), nke gbasara akụnaụba (ịkọnọmiks), akịteckichọ, injinịarịn, dgz. Nke a metụtara ihe a na-akpo ahaòtù (rejista). Agụmagụ nwekwara ike ịpụtaụdị akwụkwọ ọbụla e bipụtara ebipụta.

Nkọwa metụtara agụmagụ e bu n'uche n'ihe ọmụmụ a bụ nke hụrụ ya dịka ọrụ ekèrèuchè si n'enyouche nke mmadụ, ya bụ, ihe ọbụla mmadụ si n'isi ya chepụta, kwupụta n'ọnụ nkịtị maọbụ depụtakwa ya n'akwụkwọ.

**Nnwale Onwe 1**

1. Gịnị bụ agụmagụ?
2. Kedu mpụta dị iche iche agụmagụ nwere ike inwegasị?
3. Olee nkọwa kacha daba maọbụ metụta agụmagụ e bu n'uche n'ihe ọmụmụ a?

## 1.5 Nkenụdị Agụmagụ

Dịka anyị mụrụla maka ụdị agụmagụ anyị bụ n'obi n'ihe ọmụmụ a, anyị ga-agazi n'ihu kọwaa nkewa agụmagụ Igbo dịka o si gbasata ihe ọmụmụ anyị a. N'ihe ọmụmụ a, ihe anyị ga-ewe dịka agụmagụ abụghị naanị ndị ahụ malitere ndụ ha n'ụdị ederede n'etiti ndị maara akwụkwọkama anyị nabatakwara agụmagụ ndị ọzọ niile e si n'ọnụ nkịtị ezipụta. Ihe nke a pụtara bụ nae kewara agụmagụ ụzọ abụọ: (i) agụmagụ ọnụ na (ii) agụmagụ ederede. Ya bụ, e nwere agụmagụ ọnụ, nwekwaa agụmagụ ederede.Aha ọzọ e jiri mara agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ ọdịnala. Mana n'ezie, ọ bụrụ na e lebamie anya na aha abụọ a, a ga-achọpụta na'agụmagụ ọnụ' na 'agụmagụ ọdịnala'apụtachaghị otu ihe kpọmkwem n'ihi na e nwekwara ike ịgụnye ihe niile e dere ede n'ọdịnala ndị dịka agụmagụ ọdịnala ha. N'aka nke ọzọ, e nwekwara ike ịkpọ agụmagụ ederede agụmagụ ugbu a.

**Nnwale Onwe 2**

1. Olee nkenụdị agụmagụ?
2. Gịnị mere na ọ bụghị ihe niile dị n'ụdị ederede ka a ga-akpọ

## 1.6 Ngosipụta Nkenụdị Agụmagụ n'Eserese

Agụmagụ

Agụmagụ ọnụ (ọdịnala)     Agụmagụ ederede (ugbua)

**Nnwale Onwe 3**
Gosi n'ụdị eserese etu i nwere ike isi gosipụta nkenụdị agụmagụ.

## 1.7 Nchịkọta

Na yunit a, a kọwara na m̀pụ̀tàrà kacha daba maọbụ metụta agụmagụ e bu n'uche n'ihe ọmụmụ a bụ nke hụrụ ya dịka edemede niile nke otu oge, obodo, dgz. tụmadị ndị ahụ bụ ọrụ ekèrèuchè si n'enyo uche nke mmadụ, ya bụ, ihe ọbụla mmadụ si n'isi ya chepụta, kwupụta n'ọnụ nkịtị maọbụ depụtakwa ya n'akwụkwọ, ma e dere ya na Bekee ma e dere ya n'Igbo n'ụdị abụ, iduuazị maọbụ ejije.A bịazie kọwaa na agụmagụ dị ụzọ abụọ: nke ọnụ maọbụ ọdịnala na nke ederede maọbụ nke ugbua.

## 1.8 Nrụtụaka/Ngụmi

Ugonna, Nnabuenyi (1980). Abụ Na Egwuregwu Ọdịnala Igbo. Ikeja: Longman Nigeria.

Nwadike, Inno Uzoma (1992).Ntọala Agụmagụ Igbo.

Ikeokwu, E.S. and Onyejekwe, M.C, (2004). Mmalite Ọmụmụ na Nghọta Ejije Igbo, Enugu: CIDJAP Press.

## 1.9 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịza nnwale onwe ndị a:

**Azịza Nnwale Onwe 1**

1. Agụmagụ bụ edemede niile nke otu oge, obodo, dgz, tụmadị ndị ahụ bụ ọrụ ekèrèuchè si n'enyo uche nke mmadụ, ya bụ, ihe ọbụla mmadụ si n'isi ya chepụta. O nwekawara ike bụrụ akụkọ, ejije na abụ e ji ọnụ nkịtị kọpụta maọbụ gụpụta. Bekee kpọrọ ya Literature n'olu nke ha.

2. Mpụtara agụmagụ nwere ike ịbụ agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede. Ha niile nwere ike dị n'ụdị akụkọ, ejije na abụ.

3. Nkọwa kacha daba n'agụmagụ a na-ekwu maka ya ebe a bụ nke e ji ọnụ nkịtị akọwapụta. Ma na-enyekwa ọmụmaatụ ha n'ụdị ya dị iche iche.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

1. Nkenụdị agụmagụ dị ụzọ abụọ:
(i) agụmagụ ọnụ
(ii) agụmagụ ederede.

Ya bụ, e nwere agụmagụ ọnụ, nwekwaa agụmagụ ederede. Aha ọzọ e jiri mara agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ ọdịnala.

2. Agaghị akpọ ihe niile dị n'ụdị ederede agụmagụ n'ihi na ọ bụ naanị ederede nke metụtara ekeruche na maọbụ ederede nwere mmetụtaobi bụ nke e nwere ike ịkpọ agụmagụ.

**Azịza Nnwale Onwe 3**

Ngosipụta NkenụdịAgụmagụ n'Eserese

Agụmagụ

Agụmagụ ọnụ (ọdịnala) Agụmagụ ederede (ugbua)

# UNIT 2 AGỤMAGỤ ỌNỤ IGBO

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọmkwem
2.4 Ihe Agụmagụ ọnụ pụtara
2.5 GịnịbụAgụmagụ ọnụ Igbo
2.6 Nchịkọta
2.7 Nrụtụaka/Ngụmi
2.8 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

## 2.1 Mkpọlite

Na yunit 1, a kọwara ihe bụ agụmagụ na ụzọ olee e kewara ya. Na yunit a, a ga-elebami anya n'ihe bụ agụmagụ ọnụna nke kacha gbasa anyị n'ihe ọmụmụa-agụmagụ ọnụ Igbo.

## 2.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- kọwapụta ihe bụ agụmagụ ọnụ
- kwuo ma ndi Igbo ha nwere agụmagụ ọnụ
- kwuo ụdị agụmagụ ọnụ ndị Igbo nwere
- nye nkọwa doro anya maka agụmagụ ọnụ (ọdịnala) Igbo

## 2.3 Ndịna Kpọmkwem

Ihe Agụmagụ Ọnụ (Oral Literature) Pụtara
Ihe ọmụmụ agụmagụ ọnụ (oral literature) abụchaghị ihe terela aka n'ebe ndị mmadụ nọ ihe gbasara agụmagụ ederede marala ahụ no. N'ihi nke a, ụfọdụ ndị mmadụenyela aha dị icheiche iji kọwaa agụmagụ e detughị edetu. Ụfọdụ aha maọbụ akpọmakpọ ndị a bụ: 'folklore', 'unwritten literature', 'popular literature', 'folk literature', maọbụkwanụ 'primitive literature' (Lusweti, 1984:1). Aha ndị a niile na-arụtụaka na n'ebe ụfọdụ mmadụ nọ, e nwebeghị nkwekọrịta na nkọwa ihe ọmụmụ a. Anyị lee anya n'akpọmakpọ ndị a, o siri ike ịnabata ụfọdụ ha dịka aha kwesịrị ekwesị iji kọwaa agụmagụ ọnụ. Iji maa atụ, ọ bụrụ na anyị ji 'unwritten literature' na-akọwa agụmagụ ọnụ (oral literature), ọ pụtara na ozugbo e deturu ya edetu, ọbụghịzi agụmagụ ọnụ kama nke ederede. Ndị na-eji 'folk literature' akọwa ya na-ekwu na ọbụ n'ihi na agụmagụ ọnụ bụ ihe

ndị mmadụ chepụtara, chịkọtakwa, mana ọ rara ahụ igosịpụta etu mmadụ niile siri gbakọta aka chepụta otu abụ maọbụ otu akụkọ. Ọ bụ eziokwu na agụmagụ ọnụ na-esi n'omenala obodo apụta ma ọ na-abụ ọrụekèrèuchè sitere n'enyouche otu nwoke maọbụ nwaanyị. N'obodo ọbụla a na-enwe ụfọdụ mmadụ nwere onyinye pụrụ iche n'ịgụ abụ ọnụ, maọbụ ịkọ akụkọ. Ndị dị etu a na-egosịpụta ekereuche gbara elu n'ihe ha na-eme. Ọma mbem Lọọlọ Chinyereude bụ ezigbo ọmụmaatụ.

## 2.4 Ihe agụmagụ agụmagụ ọnụ pụtara.

Anyị agaghị anabatakwa iwere 'primitive literature' akọwa agụmagụ ọnụ n'ihi na okwu a bụ 'primitive' bụ okwu nledaanya nke pụtara ndị emepeghị emepe. Agụmagụ ọnụapụtaghị nkà ndị emepeghị emepe kamaọbụ ihe ndị mmadụ na-eme mgbe ọbụla na ebe ọbụla, ma n'obodo mepere emepe ma obodo emepeghị emepe. Mana, n'agbanyeghị nkọwa maọbụ akpọmakpọ ndị a anyị hụrụla, ọtụtụ mmadụ ekwekọrịtala na a ga na-eji 'oral literature' akpokọta ụdịrị ọrụǹkà dị iche iche dịka nkọmịrịkọ, abụ, akọmakọ (ifo), agwụgwa, ilu, dgz. 'Oral' pụtara ihe a na-ekwupụta n'ọnụ nkịtị - èkwùrùnọnụ̄ - mana ugbua mgbe anyị na-ekwu maka 'oral literature' anyị na-agụnye ndị ahụ e deturula edetu bụ ndị a na-ekwupụta na mbụ site n'ọnụ nkịtị. Ya bụ, ndị malitere ndụ ha dịka ihe a na-ekwupụta n'ọnụ nkịtị. Ụdị agụmagụ ọnụ ọbụla e nwere n'obodo ọbụla, dịkailu maọbụ abụ, na-anabata, otu mgbe maọbụ mgbe ọzọ, nkwado mba ahụ o si ya pụta maọbụ malite. Nkwado a metụtara ụdị e sina-egosịputa ya bụ abụ maọbụ ejije. N'eziokwu, agụmagụ ọnụ ọbụla, maọbụ abụ maọbụ ifo maọbụ ejije nwere ụzọ e si egosị ya nke na-adịkebe iche site n'otu obodo ruo n'obodo ọzọ. Agụmagụ ọnụ bụ ekwurunọnụ. Ọ bụ agụmagụ e detughị edetu. Nke a pụtara na a na-echepụta ya n'isi, na-ekwupụta ya sọ n'ọnụ nkịtị.

**Nnwale Onwe 1**

1. Kedu aha dị iche iche ndị mmadụ nyerela iji kọwaa agụmagụ ọnụ?
2. Kọwadaa nghọta maọbụ m̀pụ̀tàrà aha ndị ahụ ị kpọpụtara na 1 nwere.
3. Gịnị bụ agụmagụ ọnụ?
4. Ihe a ga-akpọ agụmagụ ọnụ ("oral literature") ugbua ọ bụ sọọsọ ihe a na- ekwupụta n'ọnụ nkịtị?

## 2.5 Gịnị bụ agụmagụ Ọnụ Igbo

Mgbe a na-aju, ihe bụ agụmagụ ọnụ, ihe ọzọ a ga-ebukwa n'obi bụ ajụjụ ọtụtụ ndị ocha na-ajụ bụ nke ha na-ajụ sị ma ndị Igbo ha nwere agụmagụ? N'ezie n'ezie ihe butere ajụjụ a bụ na etu agụmagụ ndị ọcha siri dị abụghị etu ha hụrụ agụmagụ ndị Igbo siri dị. Ọ bụ nke a mere

ọtụtụ n'ime ha jiri kwuo na ndị Igbo e nweghi agụmagu, ọkachasi ejije. N'ịza ajụjụa bụ isi a hụrụ kwaba okpu na yunita, anyị na-ekwusi ike sị na ndị Igbo nwere agụmagụ ha nke tozuru etozu ma kwụrụ onwe ya tupu ndị ocha awuchie. Agụmagụ ndị Igbo tupu ọbịbịa ndị ọcha bụ agụmagụanyị na-arụgara aka dịka agụmagụ ọdịnala. A ga-echetakwa na ọ bụ ka ndị ọcha na ndị ụka bịachara ka ndị Igbo jiri mụta ka e si ede ihe n'akwụkwọ, ma bidozie mgbe ahụ dewezie agụmagụ ha ede nke buteziri agụmagụ ederede. N'iheọmụmụ a, dịka anyị kwuru, nke anyị ga-eleba anya bụ agụmagụ ọnụ. Agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ ndị Igbo nwere tupu ndịọcha abata n'ala Igbo. Agụmagụ ọnụ Igbo bidoro n'oge terela nnukwu anya. Ya bụ, agụmagụ Igbo dị ọkpụtọ̀rọ̀ọkpụ. Ọ dịghị onye nwere ike ịkọwa oge agụmagụ Igbo bidoro. Anyị enweghịkwa ike ịsị na ọ bụ onye a maọbụ onye ọzọ malitere agụmagụ ọnụ Igbo. Ihe anyị nwere ike ịsị bụ na agụmagụ Igbo bidoro mgbe Igbo bidoro. Ọ na-si n'aka fere n'aka.

Agụmagụ ederede, n'aka nke ọzọ, malitere site mgbe ndị ọcha batachara n'ala anyị webata edemede. Agụmagụ ọdịnala na-esi n'aka otu ọgbọ ruo n'ọgbọ ọzọ, ọgbọ ọbụla na-enye aka n'akwalite ntolite na ọganihu agụmagụ ọnụ obodo ha. Ọgbọ ọbụla nwere ihe mere n'oge nke ya nke o si na ya webata n'agụmagụ ọdịnala. Ọ bụ nke a na-akọwa ihe mere na otu akụkọ ji enwe akọrakọ dị iche iche n'otu obodo maọbụ agbụrụ. Ebe e lekwasara ọhaobodo anya dịka onwee agụmagụ ọdịnala, a na-elekwasa ọgụ egwu ọbụla maọbụ ọkọ akụkọ ọbụla anya dịka onye nkọwapụta ọ bụghị dịka onwee. Mana n'agbanyeghị nke a, ọhaobodo nwere olileanya na onye dị etu a ga-enwe akankà ya nke ga-adị iche n'ebe nke ndị ọzọ dị.

N'ihi na e deghị agụmagụ ọdịnala ede oge e chepụtara ya, ọ na-enwe mgbanwe. A na-enwe ntinye maọbụ mwepụ n'ebe ụfọdụ. Ọ bụchaghị etu akụkọ ifo, ilu, akpaalaokwu, na ụfọdụ ngalaba ndị a dị na mbụ ka ha dị taa. N'aka nke ọzọ, ihe niile e tinyere n'agụmagụ ọdịnala na-apụta ihe, ụda, ngwa egwu a kụrụ akụ, ikitiụkwụ a zọrọ n'ala, mkpu e tiri eti, mkpọrọhịhị e gburu egbu, ọchị a chịrị achị, dgz, ha niile pụtachara ihe. Ha a chọghi nkọwa maka e ji anya ekiri ihe a na-eme ma were ntị na-anụrụ ihe a na-ekwu. Agụmagụ ọdịnala, dịka nke e dere ede bụ ọrụ nkà pụrụ iche. Ọ bụ nsiterenechiche. Ọ bụ ihe a nọdụrụ ala chee chepụta ma mepụta n'ụzọ pụrụ iche iji weta nkàmma n'ebe ndị nkiri nọ, ma sikwazie n'ụzọ egwuregwu kwalite omenala ndị nwe agụmagụ ọnụ ahụ. Omee agụmagụ ọdịnala na ndị nkiri na-emekọrịta ma emereme na-aga n'ihu. Ọ dịghị ka agụmagụ ederede ebe onye na-agụ ya enweghị ike isonye n'ihe a na-eme. N'agụmagụ ọdịnala ndị nkiri na-esonye na-emereme. Ha na-eme nke a site n'ịkụ aka, itu ego, ịgba egwu, itu aha, nakwa ụzọ ndị ọzọ.

Agụmagụ ọdịnala Igbo bụ otu ụzọ n’omenala ndị. Tupu e mepụta igwe na-ebi akwụkwọ, ọhaobodo dị iche iche gbalịrị ịchekwawa njirimara ha site n’iji okwu ọnụ, hanye omenala ha n’aka ụmụ ụmụ ha. N’agbanyeghị na e nweela igwè e ji ebipụta akwụkwọ ugbua, agụmagụ ọdịnala na mbà Afịrịka ka na-agakwa n’ihu ebe ọ dị ukwuu. Ọtụtụ ihe kpara nke a. Nke mbụ, e nweghị ike ikpọkọlọtacha ụdị agụmagụ a. Ọzọ e nweghị ike ibipụtacha ha niile n’akwụkwọ. A maghị agụ na amaghị ede ka ji ndị ojii aka. Ọ bụ naanị site n’ọnụ nkịtị ka ndị okenye nọ n’ime obodo nwere ike isi nyefee n’aka ndị na-etolite etolite omenala ha, nkwenye ha na nhụrụụwa ha na olileanya ha.

N’agbanyeghị ihe niile a anyị maara banyere agụmagụ ọdịnala Igbo, ụfọdụ mmadu, tụmadị ndị izizi mụrụ ihe gbasara ndị Igbo, kọwara na ndị Igbo enweghị agụmagụ. N’uche ndị dị etu a, agụmagụ ọbụla e deghị ede abụghị agụmagụ. Nke a mere ha ji chee na ebe e detughị agụmagụ Igbo n’akwụkwọ, ndị Igbo enweghị agụmagụ. Nke a abụghịeziokwu. Iwere agụmagụ dịka naanị ihe ndị e depụtara edipụta adabaghị. Ma ihe ndị dị etu a chefuru bụ nae nwere ụfọdụ agụmagụ mba ndi ọzọ bidoro n’agụmagụ ọnụ.Iji maa atụ, ihe dịka Iliad na-ewu ewù abụghị agụmagụ ederede kama nke Homer, onye Griis, chepụtara n’isi ya ma kwupụta ya n’ọnụ. Ihe anyị na-arụtụ aka ebe a bụ na agụmagụ nwere ike ịbụ ihe e deturu n’akwụkwọ - ndị malitere site na ndetu han’akwụkwọ - maọbụ ọ bụrụ nke ọnụ. Ya bụ, dịka anyị kwuru na mgbago, e nwere agụmagụ ọnụ, nwekwaa agụmagụ ederede. Dịka anyị rụtụrụla, ihe anyị ga-ewe dịka agụmagụ abụghị naanị ndị ahụ malitere ndụ ha n’ụdị ederede n’etiti ndị maara akwụkwọ. Nchịkọta ọrụ ǹkà niile dị elu si n’ekereuche ndị ọkwaǹkà nke ekwupụtara n’ọnụ n’etiti ndị amaghị akwụkwọ bụkwa agụmagụ - agụmagụ ọnụ. Ọrụ ǹkà ndị a (agụmagụ) bụ ndị ahụ ọkwaǹkà (ọkpọabụ, ọkọakụkọ, omeejije ọdịnala) (òmenkà) chepụtara n’isi, chebe ha na mmụọ ya ma kwupụtakwa ha n’ọnụ nkịtị dịka uri, mbem, ngụgọ, dgz. Ha bụ ọrụ nka na-ewepụta nkamma. Ekereuche na-agba elu na ha. E nwere ike ibipụtakwa ha n’akwụkwọ, gụọkwa ha mgbe ọkwaǹkà anọghị nga ahu. N’ihi ya, e tosịrị ịkpọ ha agụmagụ.Dịka a jụrụ na mgbago ma ndị Igbo ha nwere agụmagụ, anyị ga-asị na ndị Igbo, dịka ndị mba ọzọ e nwere n’ụwa, nwere agụmagụ nke ha.

**Nnwale Onwe 2**

1. (a) Ị ga-asị na ndị Igbo nwere agụmagụ ọnụ?
   (b) Kedu ụzọ ị ga-esi kọwaa agụmagụ ọnụ Igbo ma ọ bụrụ na e nwere?
2. Kọwaa ihe ị ghọtara n’okwu ndịa: “ọrụ ǹkà” na “ekereuche” ma a na-ekwu maka agụmagụ ọnụ Igbo.
3. “Iwere agụmagụ dịka naanị ihe ndị e deturu edetu adabaghị.” Kwuo ihe i chere maka ekwumekwu a.

## 2.6 Nchịkọta

Na yunit a, a kọwara naagụmagụ ọnụ bụ agụmagụ ndị Igbo nwere tupu ndịọcha abata n'ala Igbo, nke bidoro n'oge terela nnukwu anya; na agụmagụ Igbo dị ọkpụtọrọọkpụ, a maghị oge o bidoro.E kwuru naeleghị anya agụmagụ Igbo malitere mgbe ndị Igbo malitere.Agụmagụ ọnụ Igbo bụ agụmagụ e chepụtara n'isi, chebe ha na mmụọ ma kwupụtakwa ha n'ọnụ, nke ekereuche mmadụ na-agba elu na ya.

## 2.7 Nrụtụaka/Ngụmi

Ugonna, Nnabuenyi (1980). Abụ Na Egwuregwu Ọdịnala Igbo. Ikeja: Longman Nigeria.

Nwadike, Inno Uzoma (1992). Ntoala Agumagu Igbo. Ifunanya Publishers Nigeria.

Lusweti, B.M. (1984). The Hyena and the Rock, A Handbook of Oral Literature for Schools, London: Macmillan Publishers.

**2.8 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịza nnwale onwe nke ndị a:**

**Azịza Nnwale Onwe 1**

**1.** Aha agụmagụ ọnụ dị iche iche bụ
i. Agụmagụ ọdịnala
ii. Agụmagụ Igbo tupu ọbịbịa ndị ọcha.
iii. Agụmagụ gboo
iv. Agụmagụ mgbe ochie.

2. i. Agụmagụ ọdịnala bụ agụmagụ dịwara kemgbe nna nna anyị ha malitere. Ya bụ na ọ dị adị.
ii. Agụmagụ ndị Igbo nwere nke ha na-eme tupu ndị ọcha abịa.
iii. Agụmagụ dịwara ọkpụtọrọkpụ.
iv. Agụmagụ ndị mgbe gboo.

3. Agụmagụ ọnụ bụ agụmagụ e ji ọnụ nkịtị akọpụta. O nwekwara ike ịdị n'emere eme maọbụ naanị n'ekwuru n'ọnụ.

4. Agụmagụ ọnụ ugbu a bụ agụmagụ ọnụ e dere ede. Ọ bụ agụmagụ ọnụ nkịtị mana e deturu ya n'akwụkwọ maka ihe ọmụmụ na ka e wee ghara ichefu ha.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

1a. Ndị Igbo nwere agụmagụ ọnụ n'ụdị ya dị iche iche
b. Agụmagụ ọnụ Igbo bụ agụmagụ ọdịnala Igbo nke zuru Igbo niile ọnụ.

2. Ọrụ nka bụ ekereuche dị n'agụmagụ nke na-eme ka agụmagụ ahụ nwee mmetụtaobi. Ekereuche bụ mgbe mmadụ ji echiche ya, chepụta akụkọ mara mma, ọkacha nke nwere mmetụtaobi.

3. Agụmagụ nwere ike ịbụ ihe ndị e deturu edetu maọbụ ihe ndị e kwuru n'ọnụ dịka akụkọ, ejije na abụ.

## UNIT 3 AGỤMAGỤ

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọmkwem
3.4 Ihe a na-eme na ndụ ndị Igbo ha enwee agụmagụ ọnụ
3.5 ỌmụmaatụọnọdụụfọdụAgụmagụ ọnụ Igbona-agbado ụkwụ
3.6 Nchịkọta
3.7 Nrụtụaka/Ngụmi
3.8 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ.

### 3.1 Mkpọlite

Na yunit2, e lebara anyan'aha dị icheiche ndị mmadụ nyerela "agụmagụ ọnụ" nakwa nghọta maọbụ m̀pụ̀tàrà aha ndị ahụ.A rụtụrụ aka nankọwa ihe bụ agụmagụ ọnụ nke e chere kacha dabanụ; kwuo na ndị Igbo nwereagụmagụ ọnụ nke malitere n'oge terela anya. Na yunit a, a ga-ekwu makaọnọdụ na-ewepụtagasị agụmagụ ọnụ Igbo.

### 3.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunitihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- maraọnọdụ na-ewepụtagasị agụmagụ ọnụ Igbo.
- nye ọmụmaatụ mmemme ndị ahụ na-ewepụta ọnọdụ agụmagụ ọnụ Igbo ji agba elu

### 3.3 Ndịna Kpọmkwem

### 3.4 Ihe A na-eme Na Ndụ Ndị Igbo E nwee Agụmagụ Ọnụ

Dịka a kọwara na yunit gara aga, agụmagụ ọnụ bụ ekwurunọnụ. Nke a pụtara na ọ bụ sọ n'ọnụ ka a na-ekwu ya mgbe e chepụtara ya n'isi. Mmadụ nwere ike na-agụrụ onwe ya agụmagụ ọnụ dịka ịgụ egwu mgbe ọ na-arụ ọrụ, mgbe ọ na-egwu egwu na mgbe ọ na-ezu ike iji mee onwe ya obiụtọ. Ndị Igbo, dịka anyị maara, bụ ndị na-eme mmemme rinne. Ọtụtụ mgbe, agụmagụ ọnụ na-eso mmemme ndịa apụta, ya bu,ihe na-ewepụtakarị agụmagụ ọnụ bụ mmemme maọbụ emume na ndụ ndị Igbo. Ọtụtụ ihe na-eme na ndụ ndị Igbo, ma ihe ọṅụ maihe iru uju. Ihe ọṅụ nwere ike ịdị n'ụdịọlụlụ nwaanyị, ikupụta nwa,echichi,egwu ọnwa;egwu ọdịnala dịicheiche a na-enwe n'obodo dị icheiche n'ala Igbo nke nwere

ike imetụta oriri na ọṅụṅụ dịkaoriri ji ọhụrụ. A na-enwekwa oge ofufe maọbụ okpukperechi ọdịnala, dịka efemarụsị, achụmaja,agọmọfọ; maọbụoge iti mmọnwụmaọbụ ejije/egwuregwu ọdịnala ndị ọzọ dị icheiche e nwere n'obodo dị icheiche, tinyekwaraoge iru uju dịka akwamozu.Ọnọdụndia na-ewepụta agụmagụ ọnụ. Ọkwanka na-agbakwasa ụkwụ na ha agu uri, ama mbem, ago ngugo. Ọkwanka ga na-agụ egwu ebe ọhanaeze esonye, na-ege ntị, agba egwu, akụ aka dịka ọnọdụ anọ na ya si dị n'ihi ọ bụ ọnọdụ ewepụta ihe ọ na-ekwu maọbụ ihe ọ na-eme.

**Nnwale Onwe 1**

1. Ọbụ agụmagụ ọnụ niile na-eso mmemme apụta?
2. Kọwaa ihe nwere ike ime na ndụ ndị Igbo e nwee agụmagụ ọnụ.
3. Kwuo mmemme maọbụ emume nwere ike iwepụta agụmagụ ọnụ n'ala Igbo.

## 3.5 Ọmụmaatụ Ọnọdụ Ụfọdụ Agụmagụ Ọnụ Igbo na-Agbado Ụkwụ

1. **Alụmdi na Nwunye:**Mgbe a na-eme emume alumdi na nwunye n'ala Igbo, a na-agọ ọjị, na-agụ egwu, na-agba egwu ma na-emekwa ihe dị iche iche na-akwalite agụmagụ ọnụ obodo ahụ̀. Egwu ndị a bụcha ọmụmaatụ abụ ọnụ Igbo.
2. **Akwamozu:** Mgbe a na-akwa ozu n'obodo, a na-eji egwu olili ozu na egwu akwamozu dị iche iche akwanyere onye nwụrụ anwụ ùgwù ikpeazụ ruuru ya.
3. **Echichi:** Mgbe a na-echi echichi dịka omenala ndị ọzọ ndị Igbo na-eme, a na-agọ ọjị, na-agọ ọfọ, na-eme ejije ọdịnala dị iche iche dịka iti mmọnwụ, ịgba egwu nakwa agụmagụ ọnụ ndị ọzọ.
4. **Ọmụmụ Nwa:**N'ala Igbo, mgbe nwaanyị mụrụ nwa, ọtụtụ egwu nke e ji egosipụta obi aṅụrị na-esochi ọkwà a mara maka nwa ọhụrụ a mụrụ. Obodo dị iche iche n'ala Igbo nwere egwu nwa dị iche iche ha ji anabata nwa bịara ụwa ma na-enwekwa aṅụrị. Mgbe a na-agụ abụ ọnụ ndị a, e ji ya ekele Chukwu nyere ha nwa, kelee nwaanyị mụrụ nwa ma kelekwa nwoke maọbụ dị nwaanyị ahụ tụbara ya ime ahụ maka ike ọ kpara. Mgbe a na-eku nwa, a na-ejikwazi egwu nwa dị iche iche emeda nwa ọhụrụ obi iji mee ka ọ kwụsị ịbe akwa maọbụ rahụ ụra.
5. **Oriri Ji Ọhụrụ:** Emume iri ji ọhụrụ bụ emume kacha pụta ihe n'emume niile ndị Igbo na-eme. Ọ bụkwazị otu omenala ndị Igbo niile nwekoro ọnụ. Mgbe a na-eme emume a, a na-eti egwu, na-eti mmọnwụ dị iche iche nke bụ ejije, na-agọ ọfọ nke so n'abụ

ọnụ ma na-emekwa agụmagụ ọnụ dị iche iche dịka obodo ahụ si chọ.

6. Ejije ọdịnala dịiche iche e nwegasịrị n'obodo dịiche iche (Ịgba mmọnwụ, òkòròshà, ọkọnkọ, oghō, ekeleke, odò, mgbadike, dgz).
7. **Ịgba Afa:**Ọtụtụ ihe a na-eme mgbe a na-agba afa bụ nke so n'agụmagụ ọnụ Igbo.
8. **Ịchụ Aja:** Mgbe a na-achụ aja, dịka igba afa, a na-agọ ọfọ, ọjị, nke ilu na atụmatụ okwu ndị ọzọ dị iche iche na-eso na ya. Ihe ndị a niile bụcha agụmagụ ọnụ.
9. **Ịgọ Ndụ:**Mgbe a na-agọ ndụ, ọ bụ ngụgọ dị iche iche ka e ji eme ya.
10. **Ịchụ Nta:**Ndị na-achụ nta n'ala Igbo nwere egwu dị iche iche ha ji achụ nta, nke na-esonye agụmagụ ọnụ. Tupu ha pụọ jee ịchụ nta, a na-ago ọjị maọbụ ọfọ nke bụkwa agụmagụ ọnụ. Mgbe a na-achụ nta, a na-ama mbem dị iche iche ma na-agụkwa egwu ọnụ dị iche iche.
11. **Egwu Ọnwa:** N'egwu ọnwa, ụmụaka na-agụ egwu dị iche iche iji kpaa onwe ha obi ụtọ. Ha na-emekwa ejije dị iche iche dịka ijijè ndị mụrụ ha nakwa ijijè ndị okenye ụfọdu nke na-egosikwa agụmagụ ọnụ.

Ọ bụ ọnọdụ niile ndị a na-akpalite emereme agụmagụ ọnụ n'ala Igbo makana n'oge mmemme maọbụ emume ndịa n'ala Igbo, abụ ọnụ (uri, mbem, ngugo) na-agba elu.

**Nnwale Onwe 1**

1. Gịnị ka ị ghọtara mgbe a na-ekwu maka mgbasà agụmagụ ọnụ Igbo?
2. Tụlee n'uju ihe niile nwere ike imetụta mgbasà agụmagụ ọnụ nke nwere ike ibute mgbanwo.

**Mperi Agụmagụ Ọnụ Riri**

Dịka anyị hụrụla etu agụmagụ ọnụ si agbasa ma ghọtakwa na o na-esite n'aka fere aka site n'okwu ọnụ, ọ bụ nke a mere o jiri dị mkpa ịleba anya n'ụzọ dị iche iche agụmagụ ọnụ siri rie mperi. Mperi ndị a agụmagu ọnụ riri gụnyere:

a. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, ọtụtụ mgbe a na-echefukarị ọtụtụ n'ime ya. Ihe mere nke a bụ na mgbe anyị nọ n'obodo, ọtụtụ egwu maọbụ emereme na-aga n'ihu nke mere na mgbe emereme ndị a buo ibu, a na-echefukarị ndị ochie emerelarịị.

b. Ihe ọzọ dị mkpa bụ na ebe ọ bụ na ọ bụ okwu ọnụ ka e ji enyefe agụmagụ ọnụ site n'otu onye ruo n'onye ọzọ, ọtụtụ mgbe a na-eme nke a, ọ na-enwe mgbanwe. Mgbanwe a na-abata mgbe otu onye akọọrọ akụkọ chefuru ụfọdụ ihe n'ime akụkọ ahụ, onye ahụ na-

etinyekarị ụfọdụ ihe maọbụ wepụ ụfọdụ ihe iji mee ka akụkọ ahụ tọọ ụtọ.

c. Ọdịdị ọtụtụ n'ime agụmagụ ọnụ efuchaala. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, ọdịdị ọtụtụ n'ime ha efuchaala dịka ọtụtụ n'ime akụkọ ifo anyị nwere abụrụla ndị ọdịdị ha fucharala. A ga-echeta na ọtụtụ akụkọ ifo anyị nwere taa abụghị etu ndị nna nna anyị ha siri mebe ha. Ọtụtụ n'ime ha bụ nke ndị ụka gbanwere ma mee ka ha nwezie nkuzi ndị ụka.

   Ọdịdị akụkọ ifo ụfọdụ ndị ụka chere na ọ na-egosipụta nkwenye ịkpere arụsị bụ ndị ha hapụrụ ka o funahụ anyị.

d. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, mgbasa ọtụtụ n'ime ha anaghị agate aka. Mgbe a na-ekwu maka ịgate aka, ha anaghị agafekarị obodo ebe a na-emepụta agụmagụ ọnụ dị etu a. Ihe kpatara nke a bụ na ọtụtụ ndị na-emepụta agụmagụ ọnụ a enweghị ka ha ga-esi nọrọ n'ebe ise n'otu oge. Imirikiti n'ime ha, a naghị apụ n'obodo ha n'ihi na ka ha bụkwa ọkwankà, ha na-arụkwazị ọrụ aka dị iche iche iji na-enyeju ezinaụlọ ha afọ.

e. Usoro ebimndụ ọhụrụ a na-ebi ugbua na ọtụtụ ihe mkpasasịanya dị n'oge a anaghịzị ekwe ka ndị mmadụ na-etinye uchu maọbụ uche n'agụmagụ ọnụ.

**Nnwale Onwe 2**

1. Depụta ma kọwaa ụzọ niile agụmagụ ọnụ siri rie mperi.

## 3.6 Nchịkọta

Anyị ghọtara nke ọma na yunit a na agụmagụ ọnụ bụ nke mgbasa ya na-agbadokarị ụkwụ n'okwu ọnụ. Ihe mere nke a dịka anyị siri hụ na yunit gara aga bụ na ndị Igbo amaghị ka e si ede ihe tupu ndị ọcha abịa, ọ bụ nke a mere na ọtụtụ agụmagụ ndị Igbo bụ ndị mgbasa na nyefe ha site n'aka ruo n'aka bụ n'okwu ọnụ ka ọ gbadoro ụkwụ.N'ihi nannyefè (mgbasà) a na-agbado ụkwụ n'èkwùrùnọnū̄, e nwere ike inyefe akụkọ maọbụ abụ n'enweghị mgbanwe okwu, na-enyefekwa ụfọdụ akụkọ n'atụfughị ndịnisiokwu ha; nweekwa ike nwee mgbanwo nke nwere ikeịdị n'ụdị iwepụ ahịrị ochie webata nke ọhụrụ; n'isiokwu maọbụ n'aha agwa e ji akọ akụkọ.

Ọzọkwa bụ na etu ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ndị a ede, e nwere nsogbu ndị anyị mụrụ na yunit a ọ nwere. Ọ bụ nsogbu ndị a ka anyi legara anya dịka mperi agụmagụ ọdịnala riri.

## 3.7 Ihe Omume

Dee n’uju ihe niile ị maara gbasaramgbasà agụmagụ ọnụ Igbo, were ka o si dị n’agụmagụ ọnụ obodo gị nye ọmụmaatụ.

## 3.7 Nrụtụaka/Ngụmi

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Ifunaya Publishers.

## 3.8 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịza nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 1

1. Ihe m ghọtara mgbe a na-ekwu maka mgbasa agụmagụ ọnụ bụ etu a ga-esi wee mee ka agụmagụ ọnụ gbasaa, ruo ebe niile ghara ịbụ nke mkpuke kama ọ bụrụ ihe a ga-ama maka ya ebe niile na ihe ga na-ewu ewu.

2. Ihe niile nwere ike imetụta mgbasà agụmagụ ọnụ nke nwere ike ibute mgbanwo bụ ndị a:

i. Inwe mmasị n’agụmagụ ọnụ. nke a bụ n’ihi na enweghị mmasị n’agụmagụ ọnụ so na nsogbu ndị e nwegasịrị n’asụsụ n’omenala Igbo.

ii. Itinye ya n’ụdị ederede, ya bụ idepụta ya n’akwụkwọ nke ga-eme ka agụmagụ ọnụ ahụ gazuo ebe niile ma ruo onye elu na onye ala aka. Nke a ga-enyekwa aka ka agụmagụ gazuo ebe niile ma gbasaa nke ọma.

iii. Iji ego kwadoo ya ga-enyekwa aka n’ihi na ego na-eme ka ọrụ dị mfe

iv. Ndị Ọkaa itinye ọnụ n’ịgbasa ozi ọma maka agụmagụ ọnụ na ka a ga-esi kwalite ya, dgz.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

Ụzọ dị iche iche agụmagụ ọnụ sị rie mperi bụ ndị a:

a. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, ọtụtụ mgbe a na-echefukarị ọtụtụ n’ime ya. Ihe mere nke a bụ na mgbe anyị nọ n’obodo, ọtụtụ egwu maọbụ emereme na-aga n’ihu nke mere na mgbe emereme ndị a buo ibu, a na-echefukarị ndị ochie emerelarịị.

b. Ihe ọzọ dị mkpa bụ na ebe ọ bụ na ọ bụ okwu ọnụ ka e ji enyefe agụmagụ ọnụ site n'otu onye ruo n'onye ọzọ, ọtụtụ mgbe a na-eme nke a, ọ na-enwe mgbanwe. Mgbanwe a na-abata mgbe otu onye akọọrọ akụkọ chefuru ụfọdụ ihe n'ime akụkọ ahụ, onye ahụ na-etinyekarị ụfọdụ ihe maọbụ wepụ ụfọdụ ihe iji mee ka akụkọ ahụ tọọ ụtọ.

c. Ọdịdị ọtụtụ n'ime agụmagụ ọnụ efuchaala. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, ọdịdị ọtụtụ n'ime ha efuchaala dịka ọtụtụ n'ime akụkọ ifo anyị nwere abụrụla ndị ọdịdị ha fucharala. A ga-echeta na ọtụtụ akụkọ ifo anyị nwere taa abụghị etu ndị nna nna anyị ha siri mebe ha. Ọtụtụ n'ime ha bụ nke ndị ụka gbanwere ma mee ka ha nwezie nkuzi ndị ụka.

Ọdịdị akụkọ ifo ụfọdụ ndị ụka chere na ọ na-egosipụta nkwenye ịkpere arụsị bụ ndị ha hapụrụ ka o funahụ anyị.

d. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, mgbasa ọtụtụ n'ime ha anaghị agate aka. Mgbe a na-ekwu maka ịgate aka, ha anaghị agafekarị obodo ebe a na-emepụta agụmagụ ọnụ dị etu a. Ihe kpatara nke a bụ na ọtụtụ ndị na-emepụta agụmagụ ọnụ a enweghị ka ha ga-esi nọrọ n'ebe ise n'otu oge. Imirikiti n'ime ha, a naghị apụ n'obodo ha n'ihi na ka ha bụkwa ọkwankà, ha na-arụkwazị ọrụ aka dị iche iche iji na-enyeju ezinaụlọ ha afọ.

e. Usoro ebimndụ ọhụrụ a na-ebi ugbua na ọtụtụ ihe mkpasasịanya dị n'oge a anaghịzị ekwe ka ndị mmadụ na-etinye uchu maọbụ uche n'agụmagụ ọnụ.

# UNIT 4 NDỊICHE AGỤMAGỤ ỌNỤ NA AGỤMAGỤ EDEREDE NDỊNA

4.1 Mkpọlite
4.2 Mbunuche
4.3 Ndịna Kpọmkwem
4.4 Nkenke Nkọwa Agụmagụ Ọnụ na Agụmagụ Ederede
4.5 ỤzọAgụmagụ Ọnụ na Agụmagụ Ederede si dịgasị Iche
4.6 Mbamuru Agụmagụ Ọnụ Igbo
4.7 Nchịkọta
4.8 Nrụtụaka/Ngụmi
4.9 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

## 4.1 Mkpọlite

Na yunit3, e lebara anya n’ọnọdụ dị iche iche na-ewepụtagasị agụmagụ ọnụ Igbo, nyegasịkwa ọmụmaatụ̀. Na yunit a, a ga-eleba anya n’adịmiche agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede. Dịka anyi rụtụrụ aka na mgbago, ndị Igbo nwereagụmagụ ọnụ ma nwekwaa agụmagụ ederede.Ọzọkwa, anyị ga-elebakwa anya n’ọrụmaọbụ mbamuru dị iche iche agụmagụ ọnụ nwere.

## 4.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- kwuo ihe bụagụmagụ ọnụ na agụmagụederede Igbo
- maraihe dị iche n’agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederedeIgbo.
- ghọta na agụmagụ ọnụ Igbo nwere mbamuru dị iche iche na ndụ ndị Igbo.
- nye ọmụmaatụ mbamuru dị iche icheagụmagụ ọnụ nwere na ndụ ndị Igbo.

## 4.3 Ndịna Kpọmkwem

### 3.1 Nkenke NkọwaAgụmagụ Ọnụ na Agụmagụ Ederede

Dịka a kọwara na yunit 2, nchịkọta ọrụ nka niile dị elu si n’ekereuche ndị ọkwańkà, nke ekwupụtara n’ọnụ n’etiti ndị amaghị akwụkwọ, bụkwa agụmagụ - agụmagụ ọnụ. Ndị a bụọrụ ǹkà ndị ahụ ọkpọabụ, ọkọakụkọ maọbụ omeejije ọdịnala, chebere na mmụọ ya ma

kwupụtakwa ha n’ọnụ nkịtị - ekwurunọnū. Agụmagụ ederedeIgbo, n’aka nke ọzọ,bụkwa ọrụ nka si n’ekereuche mmadụ nke echepụtara n’isi ma detuo ha n’akwụkwọ. Anyị nwere ike ịsị naagụmagụ ederede bụ ndị ahụ malitere site na ndetuha n’akwụkwọ ozugboòdeechepụtara ha n’isi. AgụmagụIgbo, ma nke ọnụ ma nke ederede, na-ekwu maka ihe na-eme n’uwa, na ndu mmadu, gburugburu mmadụ, ọnwụ, ahụmiihe mmadu, ezi ihe na ajo ihe, Chukwu Okike na ihe O kere, dgz.

**Nnwale Onwe 1**

| | |
|---|---|
| 1. | Nye nkọwaagụmagụ ọnụ na agụmagụ ederedeIgbo. |
| 2. | Kedu ihe agụmagụ Igbo na-ekwukarị maka ya? |

## 4.4 Ụzọ Agụmagụ Ọnụ na Agụmagụ Ederede si dịgasị iche

Ndịiche dị n’etiti agụmagụ ọnụ na nke ederede gụnyere ndịa:

1. Otu ihe agụmagụ ọnụji dị iche n’agụmagụ ederede/agụmagụ
ugbua bụ naa na-ekwupụta, na-agụpụta nke ọnụ/ọdịnala sọ n’ọnụ (ọ bụ eziokwu na e nwekwara ike ịchịkọta ya bipụta n’akwụkwọ, dịka anyị ga-eleba anya n’ọdịnihu) ebe e dere nkeugbua ede, mana
anyị lee anya, anyị ga-ahụ na agụmagụ ederede a na-ewerekwa ihe n’ọdịnala dịka agụmagụọdịnala n’onwe ya. Mana ebe agụmagụ ọnụ dị ọkpụtọrọọkpū, dị egede, nke ederede malitere mgbe
mmụta tolitere. Ya bụ, mgbe ndịọcha batachara n’ala anyị webata
ederede
. Mgbasa agụmagụ ọnụ na-abụ site n’okwu ọnụ ebe nke ederede
na- agbasa n’ụdị ihe e deturu edetu.

2. N’agụmagụ ọnụ, ndị oleanya na-enye nnukwu aka n’ịkwalite ihe
a na-eme. Ọkwaǹkà na ndị oleanya na-anọ ihu na ihu. A bịa n’ihe dịka akọmakọ, iji maa atụ, ifo maọbụ abụ, ọkọọ na-eme ka ndị ogentị/oleanya na-esonye nke ọma. O nwere ike ịbụ n’ụdị egwu okwukwe, egwu ọkụkụ maọbụ nke ọgbụgba nke ọ na-ewebata n’akụkọ ya.Anaghị enwe ndị oleanya/ogentị n’agụmagụ ederede
e wepụ ma a na-egosipụta ejije ederede n’elu nkwago; ihe a na-enwekarị’agụmagụ ederedebụ ndị ọgụụ.

3. Ndị oleanya nwere ike itinye ọnụ mgbe ọkwaǹkà na-eme ngosi maọbụ na-ekwu okwu. Nke a adịghị n’agụmagụ ederede. Ụdị mmekọrịta na-adị n’etiti ndị oleanya na ọkwaǹkà n’agụmagụ ọnụ anaghị adị n’agụmagụ ederede.

4. N’agụmagụ ọnụ, dịka abụ, ọkpọabụ na-agbado ụkwụ n’ọnọdụ a
nọ na ya (dịka ọnọdụ akwamozu, echichi, alụmdi, dgz.) ewepụta ihe ọ na-ekwu mana n’agụmagụ ederede, dịka iduazị maọbụ abụ,
odee nwere ike ịnọrọ onwe ya n’ime ụlọ na-echepụta ihe, na-edetukwa ya n’akwụkwọ.

**Nnwale Onwe 2**

| |
|---|
| Depụta, kọwaa ụzọ agụmagụ ọnụ si dị iche n'agụmagụ ederede. |

## 4.5 Mbamuru Agụmagụ Ọnụ Igbo

Agụmagụ ọnụ nwere ọrụ dị iche iche ọ na-arụrụ ndị Igbo. Ọrụ ndị a nwekwara ike ịbụ nke a ga-elegara anya dịka uru agụmagụ ọnụ bara. Ụfọdụ n'ime ọrụ ndị a agụmagụ ọnụ na-arụ gụnyere:

**a. Iji agụmagụ ọnụeme obiutọ**

Mbamuru gbara elu agụmagụ ọnụ nwere bụ ime ndị mmadụ obi ụto. Nke a na-apụtakarị ihe n'oge mmemme maọbụ emume n'ala Igbo. N'ọnọdụ ndị anyị kwuru na mgbago na-ewepụta agụmagụ ọnụ - abụ ọdịnala, ejije ọdịnala, dgz. - na-enye ọhanaeze obiańụrị na ojujuafọ nke nwere ike ime ka mmadụ chefuo ihe mgbu na ihe ndị na-ebute iwe, ọnụma na mmekpaahụ dị iche iche a na-esi na mgbagharị ụbọchị enweta. E wepụ n'ọnọdụ mmemme, mmadụ nwekwara ike nọdụ na-agụrụ onwe ya egwu ọdịnala iji nwe obiańụri. Ụmụaka maọbụ ndị ntorobịa nwekwara ike na-agụ egwu n'oge egwu ọnwa, na-ajụrịta onwe gwamgwamgwam oge ha na-ezu ike maọbụ eji okwu mgbaghari egwu egwū iji me onwe ha obi ụto.

**b. Iji agụmagụ ọnụ enye otito**

N'agụmagụ ọnụ, otito na-agbakwa elu. Iji maa atu, abụ Igbo ọbụla na-enwe otito.Dịka abụ ìkpè maọbụ nkọcha, otito so n'otu ụzọ ọkpọabụ si eme ka ezi agwa dịrị na-aga n'ala Igbo. Nke a gbadoro ụkwụ na akpụokwū ndị Igbo nke bụ etoo dike na nke o mere o mekwa ọzọ. Nke a pụtara na ndị Igbo kwenyere na ito mmadụ n'ihe ọma o mere na-eme ka onye ahụ mere ihe ọma ahụ n'aga. Abụ otito na-adị n'ụdi n'ụdị – mmadụ ito onwe ya, mmadụ ito ndị ọzọ, maọbụ ndị ọzọ ito mmadụ.N'abụ ọmụmụ nwa, a na-eto nwaanyị mụrụ nwa, nwa ya na di ya. N'ọlụlụ nwaanyị, a na-eto di na nwunye. N' akwamozu, ndị a na-eto bụ ndị bịara akwamozu, a na-etokwa onye nwụrụ anwụ dịka ọ dị n'ụfọdụ abụ dị na *Poetic Heritage*na *Abụ Akwamozu*(p. 45) ebe e toro nwaanyị nwụrụ anwụ.

N'otu aka ahụ, ọ bụrụ abụ mmọnwụ, mmọnwụ nwekwara ike ito onwe ya, ndị mmadụ nwekwara ike ito mmọnwụ, mmọnwụ nwere ike ito ndị mmadụ. Nke a gbara elu n'*Abụ na Egwuregwu Odinala Igbo* Ugonna, tụmadị abu 44, ebe e ji egbeokwu were too mmụọ (ihuakwukwo 42 – 47. N'ihuakwukwo 50, e nwere ọtụtụ ebe mmụọ toro onwe ya. N'otu

aka ahụ, n'abụ a kporo"Odike"(ihuakwukwo13-16 n'*Abụ na Egwuregwu Odinala Igbo*) e nwere ọtụtụ abụ otito. Na *Mbem Akwamozu*(ihuakwukwo 11 – 12) e nwere ọtụtụ abụ otito.

**c. Iji Agụmagụ ọnụ akọcha Ajọ Akparamagwa**

Ọtụtụ ihe anaghị akwalite ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya jupụtara n'obodo. Iji maa atụ, igbu mmadụ, mmegbu ụmụogbenye, ọchịchọ ụfọdụ ụmụnwaanyị ka nwunye di ghara ịmụta nwa, akpọmasị, ekworo, dgz. Ọ dị mkpa na obodo ga-akatọ maọbụ kpochapụ ihe ọjọọ ndịa, mezie obodo. Ọtụtụ abụ ọnụ Igbo na-abụ abụ̀ nkọcha maọbụ abụ ìkpè, iji maa atụ, abụ a kpọrọ "Mgbeke", "Efèjàdị"(n'*Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo,* ihuakwụkwọ23 na 40*).* Ọtụtụ ifo Igbo na-ezipụtakwa nkọcha n'obodo na-enye ihe ọjọọ na ndị na-eme ha, na-ezipụtakwa ahụhụ na-adapụtakarịrị ndị na-emebi iwu – ndị ajọ omume, ndị na-emegbu ụmụogbenye, nwunye di na-emegbu nwa enwē nne, na-ezipụ ya njem egwu ka o si na ya nwụfuo n'ụzọ, dgz. Onye ajọ omume na-enweta ihe ihere na ịla n'iyi ebe ezi mmadụ na-enwe mmeri, nata ezi ụgwọ ọrụ.

**d. Iji Agụmagụ ọnụenye Ndụmọdụ**

E nwere ndị na-akpachara anya na-emegide mmadụ ibe ha, na-emekwa ihe ọjọọ dị iche iche n'obodo, ndị ihe e jiri mara ha bụ umengwụ, ịṅụ oke mmanya, izu ohi, ịgwọ nsi, dgz. Mgbe ụfọdụ, a na-esi n'agụmagụ ọnụ enye ndị dị etu a ndụmọdụ dị iche iche, na-arụtụ aka na mkpa ịgba mbọ ōnwe na mmadụ ịbara onwe ya uru dị.

Ewepụ ìkpè na otito, ụzọ ọzọ ọkpọabụ si eme ka ezi agwa dịrị na-aga bụ site na ndụmọdụ. Na nke a, ọ gaghị akọcha onye ọbụla kama ọ ga-ekwu ihe kwesịrị ka mmadụ mee. Ọmụmaatụ ndụmọdụ (Hụ *Mbem Akwmozu,*ihuakwụkwọ 96 - 97 – "Okwu ndụmọdụ ikpeazụ";
*Abụ Akwmozu, (*ihuakwụkwọ. 39, Isi 16, "Ezigbo Nwaanyị Mali Di Ya").

**e. Iji Agụmagụ ọnụ Akwalite Mmekọrịta Mmadụ na Ibe Ya**

Ọ na-abụkarị agụrụ mmadụ ka ya na ibe ya na-enwe mmekọrịta; ka a hụ ya, marakwa ya. Ya ahụkwa ndị ọzọ marakwa ha. Emume na mmemme ọdịnala Igbo dị iche iche na-akwalite ụdị mmekọrịta a. A na-enwe ya n'abụ ọnụ; n'akụkọ ifo, nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ. Ejije maọbụ egwuregwu ọdịnala dịka mmọnwụ, odò, ọkọnkọ, òkòròsha, ekeleke, ekpe, oghō, ṁgbàdike, dgz. na-enyekwa ohere inwe mmekọrịta a. Dịka anyị maara, akụkọ ọnụ na-ewe nsogwanye ndị mmadụ. Nke a na-akwalite mmekọrịta n'etiti ndị mmadụ; ndị mmadụ ana-enwe mmesaraāhụ. O na-enye ma ndị okenye ma ndị ntorobịa na ụmụaka ohere isonye na mmemme obodo; ụmụaka ana-amụta omenala obodo. Ndị na-emekarị ihere ana-amụtakwa ikwu okwu n'oha, tinyere ọtụtụ ihe mmụta ndị ọzọ e si n'agụmagụ ọnụ enweta.

**Nnwale Onwe 3**

1. Tulee uru dị iche iche agụmagụ ọnụ Igbo nwere
2. Họrọ otu ejije ọdịnala e nwere n'obodo gị, kọwaa etu o si akwalite mmekọrịta ohaobodo

## 4.6 Nchịkọta

Na yunit a kuziri na agụmagụ ọnụ bụọrụ ǹkà ndị ahụ ọkpọabụ, ọkọakụkọ maọbụ omeejije ọdịnala, chebere na mmụọ ya, na-ekwupụta ha n'ọnụ nkịtị. Ha bụ ekwurunọnụ̄. Agụmagụ ederedeIgbo, n'aka nke ọzọ, bụkwa ọrụ nka si n'ekereuche mmadụ nke echepụtara n'isi ma detuo ha n'akwụkwọ.

Yunit a lebakwara anya na mbamuru dị iche iche agụmagụ ọnụ nwere n'ala Igbo. Uru ndịa na-adị n'ụdịagụmagụ ọnụ ndịa na-arụ. A rụtụrụ aka n'ọrụ ya ndị dịka inye ọhanaeze obiaṅụrị na ojujuafọ nke nwere ike ime ka mmadụ chefuo ihe mgbu na ihe ndị na-ebute iwe, ọnụma na mmekpaahụ dị iche iche;iji enye otito ka ezi akparamagwa dịrị na-aga n'obodo; iji akọcha ajọ akparamagwa ka e benata ajọ ihe; iji enye ndụmọdụ na iji akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'obodo.
Ihe dịkwazị mkpa bụ na anyị ahụla ihe mere agụmagụ ọnụ jiri bụrụ nke ọtụtụ ndị Igbo nwere mmasi na ya. Ihe ndị mere nke a bụ na a na-ahụ ọkwankà na-emepụta ya anya, nke pụtara na a na-ahụ etu o si gbanwee ihu, gbanwee olu nakwa mmeghari ahụ ndị ọzọ ndị na-eme ka agụmagụ ahụ bamie ndị na-ekiri ya n'ụbụrụ. Ndị nkiri n'aka nke ọzọ na-esonyekwa n'ihe a na-eme.

## 4.7 Nrụtụaka/Ngụmi

Finnegan, Ruth (1970; 2012) *Oral Literature in Africa*. UK: Open Book Publishers.

Uzochukwu, Sam(1985).*Mbem Akwamozu.*Onitsha: University Pub. Company

Uzochukwu,Sam (2006)*Abụ Akwamozu,*Uruowulu-Obosi: Pacific Publishers.

Uzochukwu,Sam (2001). *Traditional Funeral Poetry of the Igbo*. Lagos: University of Lagos Press.

Egudu, Romanus na Nwoga, Donatus(1971). *Poetic Heritage: Igbo Traditional Verse*. Enugu: Nwankwo-Ifejika

Ugonna, Nnabuenyi (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*. Ikeja: Longman Nigeria

Emenanjo, Nolue (1989). *Atumatu Agumagu na Atumatu Okwu*. Ikeja: Longman Nigeria Ltd.

Nwoga, DonatusI. (1981).“The Igbo Poet and Satire.” In Abalogu, U. C, Ashiwaju, G. & Amadi-Tshiwala (Eds.). Lagos: *Nigeria Magazine*

Ikwubuzo, Iwu (1990). “A Literary Analysis of the Igbo Riddles”. M.A. Dissertation, University of Lagos.

Ikwubuzo, Iwu (1998). “Myth in Written Igbo literature: A Critical Study”. Ph.D. Thesis, University of Lagos.

Ikwubuzo, Iwu (2012) “Stylistic Features of Igbo Riddles”. In Makokha, J.K.S., Obiero, O.J. & West-Pavlov, R. (Eds.) *Style in African Literature: Essays on Literary Stylistics and Narrative Styles*. Amsterdam: Rodopi.

*Poetic Heritage* p. 45

*Abụ Igbo,* ihuakwukwo 21 (“Ada Nwaigwe”)

*Abụ Akwamozu,*p. 45, No. 20

## 4.9 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 1

Ndịiche dị n'etiti agụmagụ ọnụ na nke ederede gụnyere ndịa:

1. Otu ihe agụmagụ ọnụji dị iche n'agụmagụ ederede/agụmagụ ugbua bụ naa na-ekwupụta, na-agụpụta nke ọnụ/ọdịnala sọ n'ọnụ (ọ bụ eziokwu na e nwekwara ike ịchịkọta ya bipụta n'akwụkwọ, dịka anyị ga-eleba anya n'ọdịnihu) ebe e dere nkeugbua ede, mana anyị lee anya, anyị ga-ahụ na agụmagụ ederede a na-ewerekwa ihe n'ọdịnala dịka agụmagụọdịnala n'onwe ya. Mana ebe agụmagụ ọnụ dị ọkpụtọrọọkpū, dị egede, nke ederede malitere mgbe mmụta ederede tolitere. Ya bụ, mgbe ndịọcha batachara n'ala anyị webata ederede.
.

2. Mgbasa agụmagụ ọnụ na-abụ site n'okwu ọnụ ebe nke ederede na-agbasa n'ụdị ihe e deturu edetu.

3. N'agụmagụ ọnụ, ndị oleanya na-enye nnukwu aka n'ịkwalite ihe a na-eme. Ọkwaǹkà na ndị oleanya na-anọ ihu na ihu. A bịa n'ihe dịka akọmakọ, iji maa atụ, ifo maọbụ abụ, ọkọọ na-eme ka ndị ogentị/oleanya na-esonye nke ọma. O nwere ike ịbụ n'ụdị egwu okwukwe, egwu ọkụkụ maọbụ nke ọgbụgba nke ọ na-ewebata n'akụkọ ya.Anaghị enwe ndị oleanya/ogentị n'agụmagụ ederede e wepụ ma a na-egosipụta ejije ederede n'elu nkwago; ihe a na-enwekarị'agụmagụ ederedebụ ndị ọgụụ.

4. Ndị oleanya nwere ike itinye ọnụ mgbe ọkwaǹkà na-eme ngosi maọbụ na-ekwu okwu. Nke a adịghị n'agụmagụ ederede. Ụdị mmekọrịta na-adị n'etiti ndị oleanya na ọkwaǹkà n'agụmagụ ọnụ anaghị adị n'agụmagụ ederede.

5. N'agụmagụ ọnụ, dịka abụ, ọkpọabụ na-agbado ụkwụ n'ọnọdụ a nọ na ya (dịka ọnọdụ akwamozu, echichi, alụmdi, dgz.) ewepụta ihe ọ na-ekwu mana n'agụmagụ ederede, dịka iduazị maọbụ abụ, odee nwere ike ịnọrọ onwe ya n'ime ụlọ na-echepụta ihe, na-edetukwa ya n'akwụkwọ.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

Agụmagụ ọnụ dị iche n'agụmagụ ederede n'ụzọ dị iche iche.
Dịka ndị a: idetu ya n'akwụkwọ, iji ọnụ nkịtị akọpụta ya, ịgụ ya n'ụlọakwụkwọ, aha ode, afọ mbipụta na ebe mbipụta,

i. O nweghị ihe gbasara agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ n'ihi na ọtụtụ, ndị izizi anyị nụrụ agụmagụ ọnụ n'ọnụ ha bụ ndị nne na nna anyị ha agaghị akwụkwọ, maọbụ amaghị nke ekwe na-akụ n'agụmakwụkwọ mana ha bụ ọkaibe n'agụmagụ ọnụ.

ii. Ọ bụ naanị ọnụ nkịtị ka e ji akọ agụmagụ ọnụ maọ bụ agụ egwu agụmagụ ọnụ. E nwekwara ike ime ya dịka ejije, maọbụ akụkọnegwu, dgz.

iii. Anaghị agụta ya n'akwụkwọ. ọ bụ ọgụgụ isi chineke nyere mmadụ ka o ji ekepụta agụmagụ ọnụ. Anaghị agụta ya n'akwụkwọ, maka na ọ na-abụ ọ natarachi ndị okenye. Maka na o nwere ndị okenye bụ Odogwu n'agụmagụ ọnụ.

iv. A na-edepụta agụmagụ ederede niile n'akwụkwọ, ọ bụ ya nyere ya aha ahụ dịka ederede maka na e dere ya ede.

v. Ọ na-enwe afọ mbipụta na aha odee na ebe a nọ bipụta ya.

**Azịza Nnwale Onwe 3**

1. Uru dị iche iche agụmagụ ọnụ Igbo nwere bụ ndị a:

i. Ọ na-enye obi aṅụrị

ii. Ha abụọ na-akụzi ihe

iii. Amamihe pụrụ iche n'apụtakwa ihe na ha niile, dgz.

iv. Ọ na-akatọ agwa ọjọọ

v. Ọ na-ewulite ezigbo agwa site n'igosipụta uru e nwere ike inweta site n'ịkpa agwa ọma.

vi. E ji ya akụzịrị ụmụaka ihe, dgz.

2. **O**tu ejije ọdịnala e nwere n'obodo m, na nkọwa etu o si akwalite mmekọrịta ohaobodo bụ nke a:

Ejije ọdịnala e nwere na obodo m bụ iti mmụọnwụ.

Ndị obodo m na-eti mmụọnwụ a na-akpọ Adamma na Ngwo na steeti Enugwu. Adamma bụ mmụọnwụ na-enye ọhaobodo nnukwu aṅụrị n'ihi etu o si agba egwu nakwa etu o si eme ngala dịka nwagbọghọ n'ihi na a kpọrọ ya Adamma. Mgbe ọbụla Adamma ga-apụta, ọtụ ndị mmadụ na-ahapụ ihe ha nwere gawa n'ama ebe Adamma ga-anọ gbaa egwu.

Ndị mmadụ na-ejupụta ebe ahụ nke bụ na ụfọdụ ụmụagbọghọ maọbụ ụmụ okorobịa na-anọ ebe ahụ hụta ọyị maọbụ kwuwe okwu di na nwunye. Ebe ndị okenye na-anọkwa ebe ahụ mata onye bụ onye.

## MODUUL 2 NJIRIMARAAGỤMAGỤ ỌNỤ


Unit 1 Agụmagụ Ọnụ dịka Èchepụ̀tàrànisi/Èkwùrùnọnụ̄
Unit 2 Mgbadoụ̄kwụ Mmèm̀me n’Èkwùrùnọnụ̄
Unit 3 Nnyefè/Mgbasà.
Unit 4 Nchịkọta, NdetùAgụmagụ Ọnụ na Ihe ntụfù dị ya


## UNIT 1 AGỤMAGỤ ỌNỤ DỊKA ÈCHEPỤ̀TÀRÀN’ISI NA ÈKWÙRÙNỌNỤ̄ NDỊNA


1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọmkwem
1.4 Njirimara Agụmagụ Ọnụ Ndị Gbara Elu
1.5 Agụmagụ Ọnụdịka Èchepụ̀tàràn’isi
1.6 Agụmagụ ỌnụdịkaÈkwùrùnọnụ̄
1.7 Nchịkọta
1.8 Nrụtụaka/Ngụmi
1.9 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ




### 1.1 Mkpọlite

Na Modul 1, anyi lebara anya n’agụmagụ n’ozuzugbe, m̀pụ̀tàrà ya, agụmagụ ọnụ Igbo, adịmiche dị n’etiti agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede Igbo, kwuokwamaka mbamuru agụmagụ ọnụ. Na Modul nke abụọ a, anyị ga-eleba anya na njirimaraagụmagụ ọnụ n’uju na ihe ntụfu a na-enwe mgbe a chịkọtara ma detuo ya n’akwụkwọ.



### 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- mata njirimara agụmagụ ọnụ
- ghọta ihe mere e ji asị na agụmagụ ọnụ bụ èchepụ̀tàràn’isi.
- mara na ka a na-echepụta agụmagụ ọnụ n’isi, a na-ekwupụta ya n’ọnụ nkịtị

## 1.3 Ndịna Kpọmkwem

## 1.4 NjirimaraAgụmagụ Ọnụ Ndị Gbara Elu

Ọ dị njirimara ise gbara elu anyị tosịrị ibu n'uche mgbe anyị na-atụle ihe agụmagụ ọnụ pụtara.

1. Tupu e were agụmagụ ọnụ ọbụla dịka ekwurunọnụ ọ ga-abụ ihe e chepụtara, chịkọta ma kwupụta ya sọosọ n'ọnụ nkịtị n'enweghị mgbakwasa ụkwụ ọbụla n'ederede. (Oral composition) Ọkpọabụ nwere ike iwe ọtụtụ awa n'iji chepụta n'isi ya ma chịkọtakwa ihe ọ ga-egosị n'ọhanaeze n'ọdịnihu.
2. Tupu a kpọọ maọbụ were ihe ọbụla dịka agụmagụ ọnụ, *ngosị ya*(oral performance) ga-agbakwasa ọkpa na nke ọnụ, ọ bụghị ederede. Ihe anyị na-ekwu ebe a, bụ ihe dịka ịgụ uri, ifo ifo maọbụ ịgọ ngụgọ.
3. Ihe ọbụla anyị ga-akpọ agụmagụ ọnụ bụ ihe ọbụla nnyefe ya maọbụ mgbasa ya na-esi n'aka efere n'aka n'agbakwasaghị ụkwu n'ederede (oral transmission).
4. Ọ nweghị onye a maara nwe agụmagụ ọnụ. Nke a mere e ji a sị na ọ bụ obodo niile nwe agụmagụ ọnụ (communal ownership).
5. Ọ nwere oge pụrụ iche e ji emekarị agụmagụ ọnụ. Nke a pụtara na ọ na-enweriri ihe na-akpalite agụmagụ ọnụ. Ọ nwere ike bụrụ oge a na-eli ozu, oge a na-eme emumue dị iche iche, oge abalị maka izu ike maọbụkwanụ oge a na-alụ nwaanyị, eku nwa, dgz.

E wezuga njirimara ndị a gbara ọkpụrụkpụ, nkenụdị agụmagụ ọnụ, ya bu, ụdịrị agụmagụ ọnụ dị iche iche nwegasịrị nwere njirimara dị iche iche, nweekwa njirimara jikọtara ha niileọnụ nke gụnyere na:

1. A na-echepụta agụmagu onu n'isi ma na-ekwupụta ya n'ọnụ. A na-esi n'ọdịnala onye ọbụla maara ewepụtakarị ihe a na-ekwu.
2. Ọkwankà ga na-akpọ agụmagụ ọnụ ebe ọhanaeze gbakọrọ ndị mmadụ a na-egere
3. Agụmagụ ọnụ dị ọkpụtọrọọkpụ.
4. Ọ na-agbakwasa ụkwụ na mmemme ọdịnala - ọlụlụ nwaanyị, echichi, akwamozu w.g.
5. Agụmagụ ọnụ na-adị n'ụdị ewetaetii. N'agụmagụ ọnụ, mgbanwo na-adị n'okwu ọnụ. Ọkwankà nwere ike ịgbanwo.
6. Ọkwankà na-eji ihe nọ ya gburugburu emere nrụtụaka maọbụ isiokwu ihe ọ na-ekwu. Nke a na-enyere ya aka iwebata ihe ọhụrụ mee ka ihe ọ na-ekwu na-atọ ụtọ ma dabakwa n'ọnọdụ a nọ na ya.

Ọkwankà ọbụla nwere ụdịrị pụrụ iche o si na-ewepụta nkà agụmagụ ya Ọ na-ahịa ahụ ịhụ mmadụ abụọ si otu ụzọ akọ akụkọ ha. Onye ọbụla na-ahazi okwu ya etu o si masị ya.

7. Ọkpọabụ ọbụla maọbụ ọkọakụkọ ọbụla nwere mkpụrụokwu maọbụ nkejiokwu ndị ọ chịkotarala site n'ihe ọ na-emerịị maọbụ nụtakwanụ site n'ọnụ ndị ọzọ. Ọkpọabụ ọbụla nwere ụzọ o si na-eme ihe ya.
8. Kwunkwukwa nke a na-apụta n'ụdị mkpụrụokwu, nkejiokwu maọbụkwanụ ahịrịokwu.
9. Inyefe maọbụ ịgbasa abụ n'enweghị mgbanwo okwu ọbụla.
10. Ịkwalite mmetụtaobi site n'etu ọkpọabụ siri debe olu, nkwụsị ikuru ume na ndanusoro ya na-ese elu n'agụmagụ ọnụ.
11. Ọkpọabụ na-enwe ohere ịgbanwogharị ihe ọ na-eme dịka ndị ogentị siri chọọ ya.
12. Iji ihe a na-ahụ anya emere ngwaọrụ, mmegharịahụ, ejije w.g.
13. Nsogwanye ndị oge ntị na-agba elu n'emereme: Ikwe egwu, ịgụ egwu, ịgba egwu, ijalite ọgụụ mmekọrịta na-adị n'etiti ọgụụ na ndịoleanya na-agba elu.

a. Kọwaa n'uju njirimara agụmagụ ọnụ Igbo
b. Site n'ịgbakwasa ụkwụ n'atụ agụmagụ ọnụ obodo gị, kọwaa ihe ndị mere emereme ahụ jiri bụrụ nke so n'agụmagụ ọnụ.

## 1.5 Agụmagụ Ọnụdịka Èchepụ̀tàrànisi

Na Modul 1, yunit 2, a kowara agụmagụ ọnụ dịka ọrụ nka ndị ahụ ọkwaǹkà (ọkpọabụ, ọkọakụkọ, omeejije ọdịnala) (artiste) chepụtara n'isi, chebe ha na mmụọ ya ma kwupụtakwa ha n'ọnụ nkịtị. Ọ naghị agbado ụkwụ n'ederede; n'isi ka ọ na-echepụta ihe ọ na-ekwu dịka ọnọdụa nọ naya si dị, chịkọta na hazikwa ya na mmụọ ya, etu ọ ga-esi ekwupụta ya n'ọgbakọ ebe e nwere ndịogentị. Ya bụ, nchepụta agụmagụ ọnụ n'isi bu otu njirimaraagụmagụ ọnụ gbara elu.

Ọ dị mkpa ịrụtụ aka ebe a na, agụmagu ederede bụkwazi n'isi ka a na-echeputa ya. Ihe echeputaranisi nke agụmagụ ọnụ jiri dị iche na nke ederede bụ na ọkwankà agụmagụ ọnụ a naghị anọdụ n'ụlọ chebe maka ihe ọ ga-ekwu dịka odee agụmagụ ederede si ewepụta oge depụta ihe ọ na-eche, kama emereme ya na-agbadokarị ụkwụ n'ihe na-eme na gburu gburu ya oge ọbụla. Nke a pụtara na ọtụtụ oge emereme ọkwankà ọnụ na-adị iche site n'otu ebe ruo ebe ọzọ. Ọ nweghị mgbe ọkwankà ọnụ na-emegharị otu ihe ọ mere n'otu mmemme na mmemme ọzọ. Ihe kpatara nke a bụ na anyị ga-echeta na otu ihe anyị kwuru bụ ebe agụmagụ ọnụ jiri dị iche n'agụmagụ ederede bụ na ndị na-ege ntị maọbụ ndị nlenle na ọkwankà ọnụ na-anọ ihu na ihu mgbe ọkwankà ọnụ na-eme emereme ya. Ihe nke a pụtara bụ na ha na-esonyekwa n'ihe a na-eme nke ha na-eme site n'ịkụ aka, itu ego, itu aha na ụzọ ndị ọzọ. Ọ bụ ọnọdụ dị etu a

mere na okwankà ọnụ ji agbali ime ka emereme ya bụrụ nke ga-adabere n’ihe na-eme na gburugburu ya. Ọ na-etokwa ndị na-elele ya, ma jirikwa emereme ya ụfọdụ oge kọchaa ihe na-eme na gburugburu ebe ọ na-eme emereme ya ahụ maọbụkwanụ kuzie ihe.

Ọ bụ nke a mere na mgbe a na-ekwu na-agụmagụ ọnụ bụ èchepụ̀tàrànisi, ihe a na-arụgara aka bụ na ọ bụ ụdị agụmagụ a tụrụ anya na ọkwankà ga-abụ mmadụ nwere nkà pụrụ iche n’iji nkà ya rụọ ọrụ dị iche iche n’obodo. N’ọtụtụ ebe n’ala Igbo, a na-elegakwara ọkwankà anya dịka onye nchekwaba akụkọala obodo. Ọ bụ n’akụkọala ndị a ka ọkwankà na-eji enweta ihe ndị o ji akwado emereme ya mgbe ọ na-emepụta ya n’ihu ndị nlele. Ọ bụkwa site n’ihe ndị a meburu n’obodo nke so n’akụkọala ha ka ọ na-agbadokwa ụkwụ wee na-akuzi ihe.

Ọ bụrụ na anyị lee anya n’ejije ọdịnala dịka otu n’ime ngalaba agụmagụ ọnụ Igbo, a ga-achọpụta na ihe ndị mmadụ nkịtị na-enweghị ike ikwu bụ ihe ndị mmọnwụ na-ekwu n’ala Igbo. Ihe mere nke a bụ na a na-ahụta mmọnwụ dịka mmụọ nke ọ bụ ha nwere ike ịtụ mmadụ, ndị mmadụ maọbụ obodo mmeghie ha n’ihu na-atụghị ụjọ. Ihe ndị a mmọnwụ na-ekwu ma ha na-eme ejije ha abụghị ihe ndị akwadoro akwado kama ọ bụ dịka o si kpalite mmụọ ahụ na mmụọ. Ihe ndị mmọnwụ ahụ na-ekwukwa bụ n’isi ka o si chepụta ma kwuo ya iji kuzie ihe, kpaa ndị mmadụ obi ọma maọbụ mee ka ndị mmeghie si na mmeghe ha chegharịa. Ọ bụ ihe ọnọdụ niile a mere e ji arụgara agụmagụ ọnụ aka dịka èchepụ̀tàrànisi.

**Nnwale Onwe 2**

| |
|---|
| Depụta ma kọwaa n’uju ọkpụrụkpụ njirimara agụmagụ ọnụ ndị mere ya o jiri bụrụ akwaa akwụrụ. |

## 1.6 Agụmagụ Ọnụ Dịka Èkwùrùnọnụ̄

Ncheta ihe mmadụ mabụ dị mkpa n’iwepụta agụmagụ ọnụ ekwurunọnụ.Ọkọ akụkọ ọbụla na-echebekarị akụkọ ọ na-akọ na mmụọ etu ahụ o siri nụta ya n’ọnụ nna ya. Ọ bụ na mmụọ ka ọ na-echebe okwu ndị o ji akọ akụkọ tupu ọ malite ịkọ. Naanị ihe ọ na-eme bụ ịkpọlite site na mmụọ ya emereme dịiche iche dị n’akụkọ ahụ n’oge ha dabara maka iji mepụta ya. Nke a pụtara na ọ na-ekwunwo ihe (akụkọ) ọ chebere na mmụọ tupuọnọdụ ọga-eji mepụta eruo.

N’akọmakọ, ichebe ihe na mmụọ bụ ụzọ e si achịkọta ihe a na-ekwupụta sọosọ n’ọnụ.

Mana etu ọ dị, e nweghị ike ịkọwa mgbe, na ebe nke a malitere nakwa onye chịkọtara akụkọ a a na-akọ site na mmụọ. Ọkọ akụkọ ọbụlana-anụtakarị ya n’ọnụ onye ọzo, chebe ya na mmụọ ya ma na-enyefe ya n’aka ndị ọzọ.Ọ bụ nke a mere e ji asị naagụmagụ ọnụna-esi n’aka fere n’aka.

| |
|---|
| Kọwaa n’uju ihe ị ghotara n’ịsị na agụmagụ ọnụ bụèchepụ̀tàrànisi naèkwùrùnọnụ̄. |

## 1.7 Nchịkọta

N’ihe ọmụmụ a, o doola anya na ihe ọbụla ga-adaba n’agụmagụ ọnụ ga-abụ nke echepụtara ma kwuo n’ọnụ. Ọ ga-abụkwa nke e nwere ike ịsị na obodo niile nwekọrọ nke ha na-ejikwa okwu ọnụ esite n’aka ogbo na-eto eto nke ndị ahụ na-eto eto ga-ahafekwa n’aka ụmụ ha ma ha tolite. Anyị ghọtakwara na e nwere oge pụrụ iche e ji emepụta agụmagụ ọnụ, nke pụtara na a na-enwekarị ọnọdụ na-akpalite agụmagụ ọnụ. Ihe ọzọ dịkwa mkpa anyị kọwara bụ na agụmagụ ọnụ bụ nke a na-emenwo ugboro ugboro tupu emepụta ya n’ihu ndị nkiri.

## 1.8 Nrụtụaka/ Ngụmi


Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ Igbo*. Ifunaya Publishers.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala*. Onitsha: Africana First Publishers.

## 1.9 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a:

**Azịza Nnwale Onwe 1**

a. . Njirimara agụmagụ ọnụ nke mbụ bụ na anaghị ede ya ede.

1. Ọ bụ naanị ọnụ ka e ji akọpụta ya.
2. Amaghị onye malitere ya
3. Amaghị afọ amalitere ya.
4. O nwere ike ị dị n'ụdị akụkọ, ejije na abụ.

b. Nkọwa ihe mere na emereme nwere ike ịbụ agụmagụ ọnụ n'ihi na e nwere agụmagụ ọnụ ejije ndị dịka iti mmụọnwụ, na ụdị abụ egwu ọnwa ụfọdụ ụmụaka na abụ na-etinye ya n'emereme.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

Ndepụta njirimara agụmagụ ọnụ ndị mere ya o jiri bụrụ akwaa akwụrụ bụ ndị a:

1. Anaghị ede ya ede.
2. Ọ bụ naanị ọnụ ka e ji akọpụta ya.
3. Amaghị onye malitere ya
4. Amaghị afọ amalitere ya.
5. O nwere ike ị dị n'ụdị akụkọ, ejije na abụ.

# UNIT 2 MGBADOỤ̄KWỤ MMÈM̀ME N’ ÈKWÙRÙNỌNỤ̄

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna kpọmkwem
2.3.1 Nchepụ̀ta na ntinye ihe ọhụrụ(ekerèuchè ōnwe) n’oge m̀mèm̀me
2.3.2 Agụmagụ ịpụta n’ọnụ nkịtị n’oge m̀mèm̀me/emereme (Oral Performance)
2.4 Nchịkọta
2.5 Nrụtụaka/Ngụmi
2.6 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

## 2.1 Mkpọlite

Na yunit 1, anyị malitere site n’itulenjirimara agụmagụ ọnụndị gbara elu, kọwaa na ọ bụ ihe e chepụ̀tàrà n’isi, na-ekwupùta ya n’ọnụ̄. Na yunit a, anyị ga-aga n’ihu n’ilebakwu anyan’etu ekèrèuchè si na-agba elu n’emereme maọbụ ngosi n’onwe ya a na-enwe n’agụmagụ ọnụ,nakwa etu o si agbado ụkwụ sọọsọ n’ekwurunọnụ. Nke a pụtara na emereme maọbụ ngosi a na-eme agbadoghị ụkwụ n’ihe e deturu n’akwụkwọ. Anyị ga-atụle ka ọkpọabụ si na-ewebata maọbụ echepụta ihe ọhụrụ dị iche iche dịka ọnọdụ ọ nọ na ya si di iche iche .

## 2.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- mara na ekèrèuchè bụ otu ihe dị mkpa èkwùrùnọnụ̄ ga-enwe tupu a kpọọ ya na agụmagụ
- ghọta na mmadụ aghaghị itinye ekèrèuchè ōnwe ọ bụrụgodu na ihe ọ na-agụ bụ ihe onye ọbụla nọ ebe a na-eme mmemme maara.
- ghọta na mgbadoukwu nke a bụ ihe e chepụtara n’isi, chebe na mmụọ karịa ihe ọbụla e deturu n’akwụkwọ.

## 2.3 Ndịna Kpọmkwem

### 2.3.1 Nchepụ̀ta na Ntinye Ihe Ọhụrụ (Ekerèuchè ōnwe)n’Oge M̀mèm̀me (Composition-in-performance)

Ọ bụghị mgbeọbụla ka ihe a na-agụpụta n’agụmagụ bụ ihea chịkọtara site n’ihe e chebere na mmụọ.A na-atụ anya na mmadụ aghaghị itinye ekèrèuchè ōnwe ọ bụrụgodu na ihe ọ na-agụ bụ ihe onye ọbụla nọ ebe a na-eme mmemme maara.Ụfọdụ abụ, iji maa atụ, na-abụkarị n’oge maọbụ ọnọdụ mmemme ka a na-echepụta ha.Otu ihe ga-eme ka e wee mmadụ dịka onye ọru ǹkà bụ inwe ike tinye ihe ọhụrụ o chepụtara n’isi mgbe a nọ na mmemme maọbụ eme ngosị. Nke a bu otu ụzọ agụmagụ ọnụ (ekwurunọnụ) si apụta ihe.

Ọnọdụ ọbụla na-eweta ụdị okwu na isiokwu abụ na-enwe. Ọ bụghị okwu ọbụla maọbụ isiokwu ọbụla ka a na-eji mgbe mmadụ dị aṅaa nọ n’ọgbakọ. I ji maa atụ, ọ bụrụ na eze na-achị obodo nọdụ n’ọgbakọ, ọ gaghị adị mma ma ọkwankà kwuwe okwu ga-eme ka ihere mewe eze ahụ n’ihu ndị ọ na-achị. Ọ bụrụgodi na ọkwankà ahụ chọrọ ịtụ eze ahụ mmeghe ya n’ihu, ọ ga-eme ya n’ụzọ ndị ọzọ nọ ebe ahu enweghi ike ịghọta ihe ọ na-ekwu ma e wepu eze ahụ mere ihe ahụ. Ọ bụ nke a mere anyị jiri kwuo na ọkwankà agụmagụ ọdịnala ga-abụ onye nwere nkà pụrụ iche makana ọtụtụ oge ndị ọ na-eji agụmagụ ya akọcha maọbụ eto na-abụkarị ndị ya na ha nọ ihu n’ihu, nke pụtara na ndị ahụ nwere ohere iduzi ya ụzọ ma ọ bụrụ na ihe o kwuru abụghị eziokwu banyere ọnọdụ maọbụ onye a na-ekwu maka ya.

Ọkpọabụ na-agbanwokarị okwu dịka ọnọdụ emereme si dị iche iche nakwa ka ndị nọ ya si di iche iche. N’oge ọbụla e nwere ndị dị iche iche a na-eto,nweekwa ndị a na-akọcha. Nke a na-emetụta abụ ahụ ruo na e nwere ike ikwu na ọkpọabụ ọbụla na-akpọ abụ nke ya, na e nweghị ọkpọ abụ abụọ e nwere ike ịsị na ha na-akpọ otu abụ. Ihe anyị na-eche na ọ bụ otu abụ ka ọkpọ abụ na-akpọ n’ọnọdụ emereme dị iche iche bụ abụ dị iche iche. N’ọnọdụ, ọbụla ọ na-agbanwo okwu ya, na-agbanwokwa isiokwu abụ ya n’agbanyeghị etu o si dị ntakịrị. Ọkpọabụ nwere ike iji ihe nọ ya gburugburuemejigha ihe ọ na-ekwu mgbe ọ na-akpọ abụ ya,dịka ihe a na-ahụ anya mmadụ mepụtara eto ya n’oge a na-echi mmadụ echichi maọbụ akwamozu mmadụ. Ọzọkwa ọkpọ abụ nwere ike iwere ihe ọ nụtara n’ọnụ onye ọzọ mere ihe n’oge ngosị nke ya mana ọ ga-etinye ekereuche nke ya. Okwu ha nwere ike ịgbanwo ma ozi ma na ụmara dị na ha nwere ike bụrụ otu.

Ọkpọabụ nwekwazịrị ike were akụkọ ifo a maara amaara, rọgharịa ya nke na ọ ga-adịzị ka abụ ifo, n’udị akụkọ ọhụrụ, iji wee mee ka ndị na-ege ya ntị nwee ezigbo mmasị n’emereme ya. Ọ na-esikwazi n’ihe ọ na-

eme kuzie ihe. A ga-echeta na ọtụtụ oge, ebumnobi emereme ọbụla a na-eme n’agụmagụ ọdịnala bụ iji kuzie ihe maọbụ kpaa obi ọma. Ọkwankà dịka Mike Ejeagha bụ onye nwere nkà dị etu a. Ejeagha na-ewere akụkọ ifo doro ewu na ọkụkọ anya, rọgharịa ya ma mee ka ndị na-ege ya ntị nwezie ezigbo mmasị n’ihe ọ na-akọ. Ọ na-esikwazị n’ụzọ dị etu a kuzie ihe.

**Nnwale Onwe 1**

| | |
|---|---|
| 1. | Nye nkọwa ihe i ghọtara na mmadụ itinye ekèrèuchè ōnwe mgbe a nọ na mmemme maọbụ eme ngosị dịka otu ụzọ ekwurunọnụ si apụta ihe. |
| 2. | Kwuo ihe olena ole i chere ọkpọabụ nwere ike iwere gburugburu ọ nọ akpọ abụ etinye ihe ọhụrụ n’abụ ya n’oge mmemme. |

## 2.3.2 Agụmagụ Ịpụta n’Ọnụ Nkịtị n’Oge M̀mèm̀me/Ngosi(Oral Performance)

Mgbe anyị na-ekwu maka m̀mèm̀me maọbụ emereme, ihe anyị bu n’uche bụ̩ ngosịpụta (emume) agụmagụ ọnụ ọbụla n’ọha maọbụ n’ọgbakọ.M̀mèmme maọbụ ngosipụta a na-agbado ụkwụ n’èkwùrùnọnụ̄, ya bu,agụmagụ ịpụta n’ọnụ nkịtị n’oge m̀mèm̀me/ngosipụta.Iji maa atụ, mgbe ọkpọabụ na-akpọ abụ ya maọbụ mgbe ofoifo na-efo ifo ya maọbụ mgbe ọgọngụgọ na-agọ ngụgọ ya. Emume dị mkpa n’agụmagụ ọnụ nke bụ na e wepụ ya, anyị agaghị asị na e nwere agụmagụ ọnụ ọbụla.

Ọ bụ n’oge emereme ka olu ụtọ ọbụabụ, isu ude ya, mmegharị ahụ ya na ihu ya na-apụta ìhè na-agba elu. Ihe niile ndị a na-eme ka abụ ahụ metụta ndịogentị. Iji maa atụ, n’ọnọdụ akwamozu, ọkpọabụ nwere ike isite n’abụ ya mee ka ndị na-eru uju ọnwụ nwee nnukwu ihe mwute maọbụ nwee obiaṅụrịsite n’etu o si emegharị ahụ maọbụ mgbe ọ na-emepụta emereme ya.

E wepụ emereme, ụfọdụ ihe na-eso agụmagụ ọnụ agaghị apụta ihe, iji maa atụ, iji ụdaolu asụsụ (dịka otu ụzọ si ekwupụta echiche ụfọdụ) ụda ekwe, nzaghachi ndịokwe uri. Ọ bụ ụfọdụ ihe ndị a na-efu ma ọ bụrụ na ewekọta agụmagụ ọdịnala ma bipụta ya n’akwụkwọ. Emereme na-enyekwa aka ka onye na-eme ngosị na-eji ihe ndị ọ na-ahụ anya, ya bụ, ihe ndị dị ya gburugburu, emere ngwaọrụ n’emereme ya.Ihe nke a pụtara bụ na mgbe ọkwankà na-emepụta emereme ya, ọ bụrụ na o nwee ka onye na-elele ya sịrị chịa ọchị n’ụdị dị aṅaa maọbụ nọdụ ala n’ụzọ na-ekwesịghị ekwesị, ọkwankà maọbụ omenkà ọnụ ga-eji ụzọ aghụghọ wee gwaa onye dị etu ahụ ka ọ mee ihe kwesịrị ekwesị. Ihe nkà jiri dị

mkpa bụ na mgbe ọkwankà na-ekwu ihe ndị a, ọ ga na-elele ihu ndị nọ ebe ahụ elele ihe ọ na-eme iji mata mgbe ihu ha gbanwere n'ụdị iwe maọbụ ọchị. Nke a na-enyere ya aka ka ọ mata mgbe emereme ya na-adaba n'ihe ndị nkiri chọrọ na mgbe ọ naghị adaba.N'ihi na ọkpọabụ na-ele ndị ogentị anya mgbe ọ na-akpọ abụ ya, o na-esite na nke a tinyekwu ihe na ndịnaya abụ ya nakwa akanka ya. Iji maa atụ, ọ na-azaghachi ndịogentị dịka ha siri chọ; mgbe ụfọdụ kwa ọ na-ejije nzaghachi ndịogentị. Ọ bụghị naanị nke a, e nwekwara ike ọ site n'ejiji mee ka ozi ona-ezi ruo ndịogentị aka nke ọma.

N'oge emereme, ọkpọabụ maọbụ ọkọakụkọ nwere ike imejigha ihe ọ na-ekwu. Imejigha ihe a na-ekwu na-enye aka iweta ojujuafọ n'agụmagụ ọnụ. Ọkpọabụ nwere ike iwebata ihe ọhụrụ n'abụ ochie ya ma na ndịnaya ma n'ọdịdị ya. Ya bụ, a na-enwe mgbanwe. Nke a na-enye aka ikpalite mmụọ ndịogentị.
Ihe ndị ọzọ na-agba elu n'emereme: uduokwu, kwunkwukwa, mwebata ihe ọhụrụ, ntiwanye ụ̀mà̀rà̀ maọbụ isiokwu ka ọ daba n'ọnọdụ a nọ na ya.

**Nnwale Onwe 2**

| |
|---|
| Kọwaputanke ọma kangosipụta ụdị agụmagụ ọnụ abụọmasịrị gị si agbado ụkwụ n'ekwurunọnụ n'obodo gị.c |

## 2.4 Nchịkọta

Na yunit a, e kwuruna emume maọbụ mmemme dị mkpa n'agụmagụ ọnụ nke bụ na e wepụ ya, anyị agaghị asị na e nwere agụmagụ ọnụ ọbụla.A gakwara n'ihu kọwaa na emereme maọbụ ngosi n'onwe ya a na-enwe n'agụmagụ ọnụ na-agbado ụkwụ n'ekwurunọnụ nke pụtara na emereme maọbụ ngosi a na-eme agbadoghị ụkwụ n'ihe e deturu n'akwụkwọ. A rụtụrụ akaọ bụ n'oge emereme ka njirimara agụmagụ ọnụ ụfọdụ dịka olu ụtọ ọbụabụ, isu ude ya, mmegharị ahụ ya na etu o si edebe ihu ya na-apụta ìhè, na-agba elu. Ihe niile ndị a na-eme ka abụ ahụ na-emetụta ndịogentị.
E kwukwara na n'ọnọdụ ọbụla ọkpọabụ nọ, o nwere ike na-agbanwo okwu ya, na-agbanwokwa isiokwu abụ ya; nweekwa ike were ihe nọ ya gburugburu ọ na-ahụ anya emejugha ihe ọ na-ekwu mgbe ọ na-akpọ abụ ya. Ọzọkwa ọkpọabụ nwere ike iwere ihe ọ nụtara n'ọnụ onye ọzọmere ihe n'oge ngosi nke yamaọbụnwee ike iwere akụkọ nkịtị mmadụ kọọrọ ha, megharịa ya ma mepụta ya dịka emereme ọhụrụ, mana a na-atụ anya na ọ ga-etinye ekereuche nke aka ya.Ya bụ, ọ ga-abụrịrị onye nwere nkà pụrụ iche nke nwere ike iwere ihe na-eme na gburugburu ya rụọ ọrụ iji

mee ka emereme ya dị iche. Ọ bụ nkà dị etu a na-egosi ihe dị iche n’etiti otu ọkwankà na ibe ya. Anyị a ghọtala na iji mee ka emereme ya bụrụ ihe ndị ogentị maọbụ ndị nkiri/nlele ga na-enwe mmasị na ya, ọkwankà maọbụ omenkà ọnụ ga-eji ihe niile na-eme na gburugburu ya mgbe ọ na-emepụta emereme ya akwara ngwọrụ n’emereme ya. Ọ bụ ihe ndị a niile mere ọkwankà ọnụ jiri dị iche n’odee agụmagụ ederede.

## 2.5 Nrụtụaka/Ngụmi

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

Oraegbunam, C. U. (2018). A Litrary Analysis of Mike Ejeagha Folk Ballads, In Iwu Ikwubuzo (Ed.) *Ihafa: A Journal of African Studies*, Department of Linguistics, African and Asian Studies, University of Lagos, Vol. 9, No. 2.

## 2.6 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 1

1. Ihe bụ mmadụ itinye ekereuche onwe mgbe ọ na-eme mmemme maọbụ eme ngosị dịka otu ụzọ ekwurunọnụ si apụta ihe bụ mmadụ iwebata uche nke aka ya, n’ihi nkiri ọ na-eme. Ichepụta ihe ndị ga- akwalite maọbụ wulite agwa e kenyere ya wee tọọ ụtọ.

**2.** Ihe ole na ole i chere ọkpọabụ nwere ike iwere gburugburu ọ nọ akpọ abụ etinye ihe ọhụrụ n’abụ ya n’oge mmemme. Ha bụ ndị:

i. Mmegbu
ii. Ihụnanya
iii. Asịrị
iv. Esemokwu
v. Nkewa
vi. Ịkpọasị
vii. Akwamozu
viii. Alụmdi na nwunye
ix. Echiche.
x. Ụbịam, dgz.

# UNIT 3 NNYEFÈ/MGBASÀ AGỤMAGỤ ỌNỤ

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọmkwem
  3.3.1 Nnyefè (Mgbasà) Agụmagụ ỌnụIgbado Ụkwụ n'Èkwùrùnọnụ̄ (Oral Transmission)
  3.3.2 Mperi Agụmagụ ọnụ riri
3.4 Nchịkọta
3.5 Nrụtụaka/Ngụmi
3.6 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

## 3.1 Mkpọlite

Na yunit2, anyịkọwarana emereme maọbụ ngosi n'onwe ya a na-enwe n'agụmagụ ọnụ igbado ukwu n'ekwurunọnụ bụkwanjirimara agụmagụ ọnụ. Na yunit a, anyi ga-aga n'ihu ileba anyan'ihe ọzọ gbara elu bụkwanjirimara agụmagụ ọnụ - nnyefè maọbụmgbasà ya, na mperi agụmagụ ọnụ riri.

## 3.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- ikowa etu agụmagụ ọnụ̄ si agbasà.
- ghọta na mgbasàagụmagụ ọnụ̄, dika njirimara ndị ọzọ,na-agbado ụkwụn'ekwurunọnụ
- mara mperi agụmagụ ọnụ riri .

## 3.3 Ndịna Kpọmkwem

### 3.3.1 Nnyefè (Mgbasà) Agụmagụ ỌnụIgbado Ụkwụ n'Èkwùrùnọnụ̄ (Oral Transmission)

Olee etu akụkọ na-esi agbasa site n'otu ndụdụgandụ ruo na ndụdụgandụ ọzọ ghara ịbụ ihe e chefuru echefu? Olee etu abụ na-esi agbasa site n'otu ebe ruo n'ebe ọzọ n'atụfughị isiokwu izizi ya na mkpụrụokwu ya? Ọ bụ ajụjụ ndị a ga-eduba anyị n'ihe bụ nnyefè ekwurunọnụ. Nnyefèekwurunọnụ bụ inyefe maọbụ igbasàagụmagụ site n'ọnụ nkịtị, ịma atụ, akụkọ, abụ, ilu, gwamgwamgwam,dgz. Ọ na-esi n'aka fere

n'aka; nwanwa tote o tokwuru. Nke a na-eme ka mgbanwe dịn'agụmagụ ọnụ.

N'ihi nannyefè (mgbasà) na-agbado ụkwụ n'èkwùrùnọnū̄, e nwere ike inyefe akụkọ maọbụ abụ n'enweghị mgbanwe okwu, na-enyefekwa ụfọdụ akụkọ n'atụfughị ndịnisiokwu ha.

Site n'ichebe akụkọ maọbụ abụ ahụ na mmụọ, ọkọakụkọ maọbụ ọkpọabụ nwere ike igosị ya n'ụzọ ọdịnala e ji mara ya. Mana n'ihi echetachaghị ihe nke mmụọ mmadụ, e nwere ike kọọ otu akụkọ maọbụ gụọ otu abụ n'ụzọ di iche iche tufuo mkpụrụokwu maọbụ isiokwu dị na ya bụ abụ maọbụ akụkọ.

Mgbe abụ siri n'aka otu onye banye n'aka onye ọzọ ọ na-agbanwekarị. E nwere ike iwepụ ahịrị ochie webata nke ọhụrụ; aha agwa nwekwara ike ịgbanwo. Ihe si n'abụ maọbụ akụkọ ọzọ nwere ike bata, isiokwu nwekwara ike gbanwuo. Ọ bụrụ na ụdị mgbanwo a dịrị na-aga ruo afọ olenaole n'ihu, mgbanwo batarala na ya ga-ehi nne ruo na onye izizi kpụpụtara ya bụ abụ maọbụ akụkọ nụ ya n'ọnụ onye ọzọ, ọ gaghị amatakwa na ọ bụ ọrụ aka ya.Ụdị mgbanwo a na-agba elu karịchaa n'abụ.

**Nnwale Onwe 1**

| | |
|---|---|
| 1. | Gịnị ka ị ghọtara mgbe a na-ekwu maka mgbasà agụmagụ ọnụ Igbo? |
| 2. | Tụlee n'uju ihe niile nwere ike imetụta mgbasà agụmagụ ọnụ nke nwere ike ibute mgbanwo. Gịnị ka ị ghọtara mgbe a na-ekwu maka mgbasà agụmagụ ọnụ Igbo? |
| 3. | Tụlee n'uju ihe niile nwere ike imetụta mgbasà agụmagụ ọnụ nke nwere ike ibute mgbanwo. Gịnị ka ị ghọtara mgbe a na-ekwu maka |

## 3.3.2 Mperi Agụmagụ Ọnụ Riri

Dịka anyị hụrụla etu agụmagụ ọnụ si agbasa ma ghọtakwa na o na-esite n'aka fere aka site n'okwu ọnụ, ọ bụ nke a mere o jiri dị mkpa ịleba anya n'ụzọ dị iche iche agụmagụ ọnụ siri rie mperi. Mperi ndị a agụmagu ọnụ riri gụnyere:

c. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, ọtụtụ mgbe a na-echefukarị ọtụtụ n'ime ya. Ihe mere nke a bụ na mgbe anyị nọ n'obodo, ọtụtụ egwu maọbụ emereme na-aga n'ihu nke mere na mgbe emereme ndị a buo ibu, a na-echefukarị ndị ochie emerelarịị.

d. Ihe ọzọ dị mkpa bụ na ebe ọ bụ na ọ bụ okwu ọnụ ka e ji enyefe agụmagụ ọnụ site n'otu onye ruo n'onye ọzọ, ọtụtụ mgbe a na-eme nke a, ọ na-enwe mgbanwe. Mgbanwe a na-abata mgbe otu onye akọọrọ akụkọ chefuru ụfọdụ ihe n'ime akụkọ ahụ, onye ahụ na-etinyekarị ụfọdụ ihe maọbụ wepụ ụfọdụ ihe iji mee ka akụkọ ahụ tọọ ụtọ.

c. Ọdịdị ọtụtụ n'ime agụmagụ ọnụ efuchaala. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, ọdịdị ọtụtụ n'ime ha efuchaala dịka ọtụtụ n'ime akụkọ ifo anyị nwere abụrụla ndị ọdịdị ha fucharala. A ga-echeta na ọtụtụ akụkọ ifo anyị nwere taa abụghị etu ndị nna nna anyị ha siri mebe ha. Ọtụtụ n'ime ha bụ nke ndị ụka gbanwere ma mee ka ha nwezie nkuzi ndị ụka.

Ọdịdị akụkọ ifo ụfọdụ ndị ụka chere na ọ na-egosipụta nkwenye ịkpere arụsị bụ ndị ha hapụrụ ka o funahụ anyị.

d. Ebe ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ede, mgbasa ọtụtụ n'ime ha anaghị agate aka. Mgbe a na-ekwu maka ịgate aka, ha anaghị agafekarị obodo ebe a na-emepụta agụmagụ ọnụ dị etu a. Ihe kpatara nke a bụ na ọtụtụ ndị na-emepụta agụmagụ ọnụ a enweghị ka ha ga-esi nọrọ n'ebe ise n'otu oge. Imirikiti n'ime ha, a naghị apụ n'obodo ha n'ihi na ka ha bụkwa ọkwankà, ha na-arụkwazị ọrụ aka dị iche iche iji na-enyeju ezinaụlọ ha afọ.

e. Usoro ebimndụ ọhụrụ a na-ebi ugbua na ọtụtụ ihe mkpasasịanya dị n'oge a anaghịzị ekwe ka ndị mmadụ na-etinye uchu maọbụ uche n'agụmagụ ọnụ.

**Nnwale Onwe 2**

1. Depụta ma kọwaa ụzọ niile agụmagụ ọnụ siri rie mperi.

## 3. 4 Nchịkọta

Anyị ghọtara nke ọma na yunit a na agụmagụ ọnụ bụ nke mgbasa ya na-agbadokarị ụkwụ n'okwu ọnụ. Ihe mere nke a dịka anyị siri hụ na yunit gara aga bụ na ndị Igbo amaghị ka e si ede ihe tupu ndị ọcha abịa, ọ bụ nke a mere na ọtụtụ agụmagụ ndị Igbo bụ ndị mgbasa na nyefe ha site n'aka ruo n'aka bụ n'okwu ọnụ ka ọ gbadoro ụkwụ.N'ihi nannyefè (mgbasà) a na-agbado ụkwụ n'èkwùrùnọnū̄, e nwere ike inyefe akụkọ maọbụ abụ n'enweghị mgbanwe okwu, na-enyefekwa ụfọdụ akụkọ n'atụfughị ndịnisiokwu ha; nweekwa ike nwee mgbanwo nke nwere

ikeịdị n'ụdị iwepụ ahịrị ochie webata nke ọhụrụ; n'isiokwu maọbụ n'aha agwa e ji akọ akụkọ.

Ọzọkwa bụ na etu ọ bụ na edeghị agụmagụ ọnụ ndị a ede, e nwere nsogbu ndị anyị mụrụ na yunit a ọ nwere. Ọ bụ nsogbu ndị a ka anyi legara anya dịka mperi agụmagụ ọdịnala riri.

## 3.5 Nrụtụaka/Ngụmi

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Ifunaya Publishers.

## 3.6 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 2

Ụzọ agụmagụ ọnụ sị rie mperi bụ ndị a:

i. Anaghị ede ya ede
ii. Ọ bụ uche onye adị ya njọ.
iii. Amaghị mgbe ọ malitere. N'ihi ya, agaghị enwe ike ịkatọ ya maọbụ ịsị na nke a maọbụ nke ọzọ adabaghị adaba.
iv. O nweghị otu ụzọ kpọmkwem e si agụ maọbụ emepụta ya, dgz.

## YUNIT 4 NCHỊKỌT NA NDETÙ AGỤMAGỤ ỌNỤN’AKWỤKWỌ: URÙ NA IHE NTỤFÙ DỊ YA

4.1 Mkpọlite
4.2 Mbunuche
4.3 Ndịna Kpọmkwem
4.4 Urù dị n’ịchịkọta na idetu Agụmagụ Ọnụ n’Akwụkwọ
4.5 Ihe Ntụfu dị n’ịchịkọta na idetu Agụmagụ Ọnụ n’Akwụkwọ
4.6 Ebe a ga-ahụ Ọmụmaatụ Agụmagụ Ọnụ ndị E deturula n’Akwụkwọ
4.7 Nchịkọta
4.8 Nrụtụaka/Ngụmi
4.9 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

### 4.1 Mkpọlite

Nayunit3, anyị kwuru na nnyefè maobu mgbasàagụmagụ ọnụ nke na-agbadokwa ukwu n’ekwurunọnụ bụkwanjirimara agụmagụ ọnụ.Anyị lebakwara anya na mperi agụmagụ ọnụ riri. Na yunit a, anyi ga-akọwa ihe na-eme mgbe a chịkọtara, detuo agụmagụ ọnụ n’akwụkwọ.

### 4.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- ghọta naịchịkọta na idetuagụmagụ ọnū n’akwụkwọ na-enwe ọtụtụ ihe ntufụ.
- mara akwụkwọ ebe a ga-ahụagụmagụ ọnū e deturu edetu bipụta n’akwụkwọ.

### 4.3 Ndịna Kpọmkwem

### 4.4 UruDị n’Ịchịkọta na Ịdetu Agụmagụ Ọnụ n’Akwụkwọ

Dịka anyị kwuru na mbụ, ihe anyị ga-ewe dịka agụmagụ abụghị naanị ndị ahụ bidoro ndụ ha n’ụdị ederede n’etiti ndị maara akwụkwo. Nchịkọta ọrụ ǹkà niile dị elu si n’ekereuche ndị ọkwanka (omenka) nke e kwupụtara n’ọnụ n’etiti ndị amaghị akwụkwọ bụkwa agụmagụ - agụmagụ ọnụ. Ọrụ ǹkà ndị a (agụmagụ) bụ ndị ahụ ọkwanka (artist)

chepụtara n'isi, chebe ha na mmụọ ya ma kwupụtakwa ha n'ọnụ nkịtị dịka, uri, mbem, ngụgọ, akụkọ, dgz. Ha bụ ọrụ ǹkà na-ewepụta nkamma. Ekereuche na-agbakwa elu na ha. Taa, n'ihi na ndị Igbo amalitela ịde ihe, e nwere ike ịchịkọba agụmagụ ọnụ ndị a ma bipụtakwa ha n'akwụkwọ.

Ọ bụ ezie na edetuola ọtụtụ agụmagụ ọnụ Igbo n'akwụkwọ taa mana nke a emeghị ka ha bụrụ agụmagụ ederede kama ha bụzị agụmagụ ọnụ e deturu edetu.Idetu, bipụta agụmagụ ọnụn'akwụkwọdịka ọtụtụ mmadụ merela n'akwụkwọ ndị ahụ e depụtara n'okpuru, nwereọtụtụ uru dị ya dịka ọ dị n'agụmagụ ederede. Nke kacha gba elu bụ ichekwawa ya ka ọ ghara ịnwụ ọkachasị n'oge ọgbara ọhụrụ a ọtụtụ mmadụ anaghị enwezighị mmasị n'agụmagụ ọnụ. Ụfọdụ ndị e ji agụmagụ ọnụ mara – ndị ọkpọabụ, ọmambem, omejije ọdịnala ahapụla imeobodo gaa biri n'obodo mepere emepe; ụfọdụ akaala nkā, ike agwụ ha ebe ụfọdụ bụrụla ndị nwụrụ anwụ. Ma ọ bụrụ na e sekọtara ọrụ ǹkà ha, detuo, bipụta n'akwụkwọ, ọ ga-anọte aka bụrụkwa ihe e nwere ike ịgụ n'ụlọakwụkwọ ma ọ bụrụgodu na onye ahụ nwụọ, Ezigbo ọmụmaatụ bụ mbem Lọọlọ Chinyere Ude, onye Ọsụihiteụkwa, nke Ọkammụta Sam Uzochukwu chịkọtara,bipụta n'akwụkwo. Taa, Loolo Chinyere Ude alaala ala ahụdebe, mana ọrụ ǹkà ya nke Uzochukwu bipụtara dịka *Mbem Akwamozu* nakwa *Abu Akwamozu* bụ akwụkwọ e ji amụ ihe n'ụlọakwụkwọ dị elu dị iche iche.

Ugbu a, o doola anya na e nwere agụmagụ ederede, nwekwa nke ọnụ - nke a na-ekwupụta sọ n'ọnụ. Ihe anyị na-arụtụ aka ebe a bụ na ihe anyị ga-ewe dịka agụmagụ nwere ike ịbụ ihe e deturu n'akwụkwọ mọọbụ nke ọǹụ - nke e kwuru sọọsọ n'ọnụ (ekwurunọnụ). Ya bụ, e nwere agụmagụ ederede, nweekwa nke ọnụ/ọdịnala. Kama otu ihe anyị ga-ebu n'uche bụ na agụmagụ ederede nwere ọtụtụ ụzọ o siri kara nke ọnụ mma: (i) Ihe e deturu edetu na-adịgide (ii) Ọ na-enye aka ka ndị na-etolite etolite na-agụ ya, a ma ya, (iii) Ọ na-enye aka ichebe ihe ahụ e deturu edetu, ya bụ,inwe nchekwa ọtụtụ oge makana ihe e deturu edetu na-anọte aka nke ga-eme ka a na-echeta ya ọ bụrụgọdụ na onye maọbụ ndị dere ya nwụọ.Mana anyị agaghị ejiri makana ọ dị ọtụtụ ụzọ agụmagụ ederede si kara nke ọnụ mma were agụmagụ ọnụ dịka ihe ọ dịghị ihe ọ bụ.

**Nnwale Onwe 1**

| |
|---|
| Kedu uru digasi n'ịchịkọta, idetu na ibipụta agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ? |

### 4.5 Ihe Ntụfu Dị n'Ịchịkọta na Idetu Agụmagụ Ọnụ n'Akwụkwọ

N'agụmagụ ọnụ, dịka n'abụ, ọkpọabụ na-eme ndị mmadụ obi ụto site n'etu o si eme ihu ya na mmegharị ahụ ya.Ụdị mmekọrịta na-adị n'etiti

ndị oleanya na ọkwanka n'agụmagụ ọnụ anaghị adịzi n'agụmagụ edeturu edetu.Ọ na-egosị ọtụtụ ihe na-eme ka ndị oleanya nwee mmasị n'abụ ọ na-akpọ. Ọkpọabụ nwere ike isi n'otu okwu banye n'ọzọ.

Na ngosị agụmagụ ọnụ, olu ọkwanka na ụda ngwaegwu na-agba elu na-ewepụta ndanusoro na-eme ndị oleanya obi ụto mana n'agụmaguọnụ edeturun'akwụkwọ, ihe ndị a niile adịghị ya. Ọ bụ n'oge emereme ka olu ụtọ ọbụabụ, ịsụ ude ya, mmegharị ahụ ya na íhú ya, na ụda ngwa egwu so abụ,na-apụta ihe. N'otu aka ahu,ụdaolu asụsụ na-egosị m̀pụ̀tàrà okwu nwere na-agbakwa elu. E nweghị ike igosị ha mgbe e deturu ihe edetu.N'ihi na a naghi edetu ihe ndia n'akwukwo, o buihe ntụfu dị n'idetu abụ n'akwụkwọ.Ọ bụ nke a mere Ụzọchukwu jiri sị na naanị ihe enweghị ike ịdepụta n'akwụkwọ bụ emereme dị iche iche so agụmagụ ọnụ.

**Nnwale Onwe 2**

| |
|---|
| 1. Kedụ uru ndị dị n'ibipụta agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ?<br>2. Nyochaa n'uju, ihe ntụfu e nweghị ike idepụta n'akwụkwọ n'agụmagụ ọnu |

## 4.6 Ebe a ga-ahụ Ọmụmaatụ Agụmagụ Ọnụ ndị E Deturula n'Akwụkwọ

Ọ bụ eziokwu n'agụmagụ ọnụ bidoro n'oge ochie, mgbe mmụta na edemede adịghị mana a ka nwere agụmagụ ọnụ taa n'agbanyeghi na ederede na mmụta adịla.

Taa, e detuola ọtụtụ agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ mana nke a emeghị ka ha bụrụ agụmagụ ederede (agụmagụ ugbua). Ebe ị ga-ahụ ọmụmaatụ agụmagụ ọnụ e deturula n'akwụkwọ bụ na:

**Abụ Ọnụ/Ọdịnala:**

i. *Poetic Heritage* nke R.N. Egudu na D. Nwoga chịkọtara
ii. *Mbem na Egwu Igbo,* nke F.C. Ọgbalụchịkọtara
iii. *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*nke Nnabuenyi Ugonnachịkọtara
iv. *Mbem Akwamozu* - Sam Ụzọchukwuchịkọtara
v. *Abụ Akwamozu* - Sam Ụzọchukwu
vi. *Traditional Birth Poetry of the Igbo*- Uzochukwu,
vii. *Traditional Funeral Poetry of the Igbo*- Uzochukwu,
viii. *Oral Poetry in Nigeria* – Uchegbulam N, Abalogu, Garba
ix. Ashiwaju na Regina Amadi-Tshiwala.
x. *Okwu Ntuhi:A Book of Igbo Riddles (Gwa m Gwa m)* – F.C. Ogbalu (Onitsha: University Publishing Co.)

**Ọdịnịgha Ọdịnala (ifo, nkọmịrịkọ, nkọkịrịkọ, ụkabụilu, nkọnilu)**:

i. *Ọmalịnze*(akwụkwọ Ifo) – 'Nolue Emenanjọ (ed.)
ii. *Oka Mgba*(akwụkwọ Ifo) –John Iroaganachi
iii. *Mbediọgụ*(akwụkwọ Ifo)- F.C. Ọgbalụ
*iv.* *Ụkabụilu Igbo* -Emenanjọ
*v.* *Nza na Obu*- F.C. Ọgbalụ
*vi.* *Nwaada Lọọlọ* (akwụkwọ Ifo) – Chigozie Nnabuihe
*vii.* *Atụmatụ Agụmagụ Na Atụmatụ Okwu*,(akwụkwọ Agụmagụ Ọnụ Igbo), nke Emenanjọ chịkọtara.

**Ejije/Egwuregwu Ọdịnala**

*(i)* *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo* -Nnabuenyi Ugonna
*(ii)* *Mmonwu: A Dramatic Tradition of the Igbo*- Nnabuenyi Ugonna
*(iii)* *Igbo Masks* - Onuora Ossie Enekwe

Na a chịkọtara, detuo na bipụta agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ, o mere ka ọ ghara ịbụzi agụmagụ ọnụ? Ọ bụ eziokwu na ugbua a na-edetu agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ mana nke a emeghị ya ka ọ bụrụ nke ugbua.

**Nnwale Onwe 3**

| |
|---|
| Depụta akwụkwọ niile e bipụtarala na nkenụdị agụmagụ ọnụ ị mụrụla gbasara ha. |

## 4.7 Nchịkọta

Na yunit a, anyị kwuru na e nwekwara ike idetu, bipụta agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ, rụtụgasị aka n'uru dịiche iche dị na ya, nke otu n'ime ha bụ ichekwawa ya ka ọ ghara ịnwụ, ọkachasị n'oge ọgbara ọhụrụ a ọtụtụ mmadụ anaghị enwezi mmasị n'agụmagụ ọnụ. N'otu aka ahụ, anyị rụtụkwara aka n'ihe ndị ahụ na-apụta ìhè n'oge ngosi nke anaghịziadịmgbe e deturu agụmagụ ọnụ edetu n'akwụkwọ:olu ụtọ ọbụabụ, ịsụ ude ya, mmeghar ị ahụ ya na íhú ya, ngwa egwu so abụ, dgz.Ụfọdụ ihe ndị a na-efu bụcha ihe ndị na-eso emereme iji mee ka ọ bụrụ nke ndị nlele ga na-echeta oge niile. A chọpụtala dịka anyị hụrụ na yunit gara aga na e nwere ọtụtụ mperi agụmagụ ọnụ riri, na ụzọ a ga-esi mee ka mperi ndị a belata bụ site n'ịde agụmagụ ọnụ ndị a n'akwụkwọ.
Anyị pịachiri ihe anyị kwuru site n'ime ka o doo anya naọ bụ eziokwu na ugbua a na-edetu agụmagụ ọnụ n'akwụkwọ mana nke a emeghị ya ka ọ bụrụ nke ugbua (nke ederede).

## 4.8 Nrụtụaka/Ngụmi

Ikwubuzo, Iwu (1990). "A Literary Analysis of Igbo the Riddles". M.A. Dissertation, Department of Department of African Languages and Literatures, University of Lagos.

Uzochukwu, S. (1982). Features of Igbo Oral Poetry. In Ugonna, N. (Ed.), *Igbo*: *Journal of SPILC*, No.1, Lagos: Department of African Languages and Literatures, University of Lagos.

Uzochukwu, S. (1985).*Mbem Akwamozu*. Onitsha: University Publishing Co.

Uzochukwu, S. (1992). *Abu Akwamozu*. Uruowulu-Obosi: Pacific Publisher Ltd.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

## 4.9 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 1

1. Uru digasi n’ịchịkọta, idetu na ibipụta agụmagụ ọnụ n’akwụkwọ bụ ndị a:
i. Ọ ga-eme ka o yie agụmagụ ederede.
ii. Ọ ga-eme ka a ghara ichefu ya.
iii. Ọ ga-adị ọkpụtọrọkpụ.
iv. Onye ọbụla nwere ike ịgụ ya oge ọbụla masịrị ya.
v. Ọ ga-emekwa ka onye ọbụla
vi. Otu onye nwere ike ime ya bụ agụmagụ ọnụ oge ọ nọ naanị ya.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

1. Uru digasi n’ịchịkọta, idetu na ibipụta agụmagụ ọnụ n’akwụkwọ bụ ndị a:
i. Ọ ga-eme ka o yie agụmagụ ederede.
ii. Ọ ga-eme ka a ghara ichefu ya.
iii. Ọ ga-adị ọkpụtọrọkpụ.
iv. Onye ọbụla nwere ike ịgụ ya oge ọbụla masịrị ya.
v. Ọ ga-emekwa ka onye ọbụla
vi. Otu onye nwere ike ime ya bụ agụmagụ ọnụ oge ọ nọ naanị ya.

2. Ihe ntụfu e nweghị ike idepụta n’akwụkwọ n’agụmagụ ọnụ bụ ndị a:
a. Anya e lere ele na nke a rọrọ arọ. Ọ bụghị ihe niile na-apụta ihe n’agụmagụ ọnụ na-apụta ihe na nke e edere ede. Ihe dịka ịkpa ọchị maọbụ ụdị ọchị mmadụ chịrị. Agaghị akọwanwu ụdị ọchị mmadụ chịrị. Naanị ihe ga-eme bụ e were ọnụ nkịtị kwuo’o wee chịa ọchị.
b. Mmgharị ahụ agaghị abata ebe ahụ n’ihi na agaghị ede ya n’akwụkwọ

**Azịza Nnwale Onwe 3**

Akwụkwọ niile e bipụtarala na nkenụdị agụmagụ ọnụ m mụrụla gbasara ha bụ ndị a:

a. Mbediọgụ
b. Ụwadịegwu
ch. Agụmagụ ọdịnala Igbo, dgz.

## MODUL 3 NKENỤDỊ AGỤMAGỤ ỌNỤ IGBO

Yunit 1 Abụ Ọnụ
Yunit 2 Akụkọ/Ọdịnịgha Ọdịnala
Yunit 3 Ejije/EgwuregwuỌdịnala

## YUNIT 1 ABỤ ỌNỤ

**Ndịna**

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 NdịnaKpọmkwem
1.3.1 Ihe bụ Abụ Ọnụ
1.4 Nkenụdị Abụ Ọnū̩
1.5 Uru Abụ Ọnū̩ Bara na Ndụ Ndị Igbo
1.6 Nchịkọta
1.7 Nrụtụaka/Ngụmi
1.8 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ



### 1.1 Mkpọlite

Na Modul 2, anyị lebara anya na njirimaraagụmagụ ọnụ n'uju na uru na ihe ntụfu a na-enwe mgbe a chịkọtara ma detuo ya n'akwụkwọ. Na Modul nke a, anyị ga-eleba anya na nkenụdị agụmagụ ọnụ. Ụzọ atọ gbara elu e kewara agụmagụ ọnụ (ọdịnala) Igbo anyị ga-eleba anya bụ:

1. Abụ ọnụ/ọdịnala (Poetic verses/ oral poetry)
2. Akụkọ ọdịnịghaỌdịnala (Traditional Prose Narratives)
3. Ejije/Egwuregwu Ọdịnala (Traditional drama)

**Ngosipụta Nkenụdị Agụmagụ Igbo n'Eserese**

Agụmagụ Igbo

Agụmagụ Ọnụ (Ọdịnala) Agụmagụ Ederede (Ugbua)

Abụ Akụkọ ọdịnịgha Ejije Abụ Iduuazị Ejije

Ọdịnala Ederede

Ederede

(Poetic verse)(Traditional (Traditional

Prose narratives) Drama)

N’eserese a, e gosiri nkenụdịagụmagụ ọnụ naagụmagụ ederede Igbo. Mana dịka anyị kwuru na mbido ihe ọmụmụ a, nke anyị na-eleba anya ebe a bụagụmagụ ọnụ

Nke ọbụla n’agụmagụ ọnụ ndị a e gosiri n’elu nwekwara nkenụdị nke ya. Anyị ga-eleba ha anya n’uju n’otu n’otu, meekwankenụdị ha.

## 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- kọwaa ihebụabụ ọnụ.
- mụta na abụ ọnụ otu n’ime nkenụdịagụmagụ ọnụ Igbo.
- marakwa ụzọ dị iche iche ndị ọkammụta sirila mee nkenụdị abụ ọnụ n’onwe ya
- kwuo uru abụ ọnụ bara na ndụ ndi Igbo.

## 1.3 Ndịna Kpọmkwem

### 1.3.1 Ihe bụ Abụ Ọnụ

Ndị Igbo bụ ndị a maara nke ọma n’ihe gbasara iwepụta abụ n’oge ngosi (emereme) dị iche iche ha na-eme na ndụ ha. Ngosị a nwere ike ịbụ ihe dịka ofufe, emume ọhanaeze, akwamozu, ejije ọdịnalanakwa ọlụlụ nwaanyị, ya bụ, ebe e nwere mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Gịnị bụ abụ ọnụ? Ajụjụ a bụ nke a ga-asị tara akpụ ma kpọọ akpọ n’ọsịsa. Ihe o jiri dị etu ahụ bụ na mgbe a na-ekwu maka abụ, o nwere etu dị iche iche o si emetụta ndị mmadụ n’ahụ. Ọ bụkwa maka mmetụta a ndị mmadụ nwere banyere abụ mere o jiri hịa ahụ ịnwe otu nkọwa a ga-asị chịkọtara echiche niile banyere abụ. Ihe nke a pụtara bụ na e nwere nkọwa dị iche iche ndị mmadụ nyere banyere abụ. Ụfọdụ kọwara abụ dịka nkọwapụta pụrụ iche mmadụ jiri aka ya nye banyere etu ihe siri metụta ya na mmụọ. Ndị ọzọ sịkwa na abụ bụ okwu ọbụla aghaziri nke ọma nke nwere ndanusoro nke e ji asụsụ pụrụ iche ezipụta. *Longman Dictionary of Contemporary English* kọwara abụ dịka nkenke ederede e dokọro n’usoro ahịrị na ụda nke ji asụsụ enyouche ewepụta mmetụtaobi dị omimi, echiche maọbụ ahụmihe mmadụ.

Na nkọwa nke ya gbasara ihe bụ abụ, Ugonna sịrị na ihe anyị ga-akpọ abụ abụghị naanị ihe e depụtara edepụta (abụ ederede), kamaọbụkwa okwu e dokọro kwupụta ya n’ọnụ nkịtị. Ọ gara n’ihu kọwaa abụ dịka

okwu dị n'ahịri n'ahịrị maọbụ n'ọgbara nwere ndanusoro (rhythm) a na-ekwe ekwe, agụ agụ maọbụ ekwu ekwu" (Ugonna, 1980: xi).
Ihe a na-arụtụje aka na nkọwa ndị a bụ na abụ ọnụ Igbo abụghị abụ e deturu n'akwụkwọ kamaọbụ ihe ọkpọabụ na-echepụta n'isi ma na-ekwupụta ya n'ọnụ. Ya mere e ji akpọ ya ekwurunọnụ.

**Nnwale Onwe 1**

| | |
|---|---|
| 1. | Kọwaa abụ ọnụ |
| **2.** | Detuo ma gụọ abụ ọnụ Igbo ị maara. |

## 1.4 Nkenụdị Abụ Ọnụ (Classification)

E nwere ụdịdị abụ ọnụ abụọ a na-ekewa n'ụzọ nkenụdị abụọ: (i) Abụ ndị nwere ike ịnọrọ onwe ha n'agbanweghị agbanwe, ya bu, abụ ndị anaghị agbanwe ndịna ha mgbe a na-akpọpụta ha. Usoro e si akpọpụta ha na-abụ otu site n'obodo ruo n'obodo. Asụsụ ha na-abụ asụsụ ǹkà, ya bụ asụsụ pụrụ iche, asụsụ dị elu jupụtara n'atụmatụokwu.

Ndịna ha na-abụ otu site na mba ruo na mba n'agbanyeghị olundị/oluonye e ji akpọpụta ya. A na-akpọ ha abụ n'ihi na ha nwere njirimara niile abụ nwere. Ọmụmaatụ abụ ndị a bụ ilu, gwamgwamgwam/agwụgwa, ojuọnụ maọbụ okwuntabire. (ii) Abụ ndị nwere ike inwe mgbanwe na ndịna ha. Iji ma atụ, abụ akwamozu, abụ echichi, abụ omumu nwa, dgz.

A bịa na nkenụdị abụ ọnụ Igbo, Ufọdụ ndị ọkammụta kewara ya n'ụzọ dị ichiiche. N'akwụkwọ Ọgbalụ nke ọ kpọrọ *Mbem na Egwu Igbo,* o kewara ya n'ụzọ iri. Ha bụ:Ọlụlụ Nwaanyị, abụ ọmụmụnwa, abụ Iku Nwa, abụ Oriri na Ọṅụṅụ, abu Ịgọ Ndụ, abu egwu Ọnwa, Egwu eji ebu Agha, Egwu maka Echichi, Egwu maka Akụkọ n'Abụ, Egwu maka Ọnwụ na Ndụ.

Egudu na Nwọga, n'akwụkwọ nke ha kpọrọ *Poetic Heritage* kewara nke ha ụzọ asaa. Ha bụ ndị a:Abụ Otito (Praise Poems), Abụ Mkpọku (Invocation Poems), Abụ Agọmagọ (Incantation Poems), Abụ Ọgbụgba (Dance Poems: Igodo), Abụ Ezumike (Relaxation Poems), Abụ Ìkpè (Satirical Poems) na Abụ Arịrị/Akwa (Lamentation Poems)

Ugonna n'akwụkwọ nke ya ọ kpọrọ *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo,* kewakwara nke ya n'ụzọ ndị a:Abụ Ofufe, Abụ Ịhụnanya na Abụ Nkọcha, Abụ Egwuregwu, Abụ Ifo, Abụ Ụrọ na Abụ Nwa, Abụ Ilu na Ojuọnụ
E nwere ụdị abụ itolu dị na nkenụdị a Ugonna mere. Ebe nkenụdị Ogbalu na Egudu na Nwoga mere wepụtara naanị ụdịrị abụ (ii) a kọwara n'elu, ya bụ, abụ ndị okwu ha dị mgbanwe, nke Ugonna mere wepụtara bụ ụdị abụ dị n'ụdịrị (i) nakwa (ii) site n'itinye òjuọnụ (okwu

mgbawaire). Nkenụdị ndịa niile gbadoro ụkwụ na ndịna, ya bụ, ihe abụ na-ekwu maọbụ isiokwu ya. E nwegasịrị ọtụtụ mperi ịgbado ụkwụ na ndịna eme nkenụdị riri.

Mana n’ihi mperiime nkenụdị abụ n’ụzọ ndị a riri, onye ọkammụta ọzọ bụ Ụzọchukwu, tụpụtara ụzọ ọzọ e nwere ike isi wee mee nkenụdị abụ ọnụ Igbo. Ụzọ nkenụdị nke ya dị iche na nke ndị ọkammụta ọzọ merela. Ya bụ, kama ịgbakwasị ụkwụ naanị n’isiokwu (ndịna) wee mee nkenụdị nke ya, ọ gbakwasịrị ụkwụ n’etu abụ si apụta ọkpọabụ n’ọnụ. Ọ kọwara n’abụ nwere ike ịpụta ọkpọabụ n’ọnụ n’ụdị ndị a:Uri (Song), M̀bèm̀ (Chant) na Ngụgọ (Recitation)

Ka anyị tụlee nke a n’eserese a na-esonụ:

**Abụ ọnụ Igbo**

**Uri (Song)** **Mbem (Chant)** **Ngụgọ (Recitation)**

A bịa n’uri, ọ gara n’ihu kewakwuo ya ụzọ teghete, kewaa mbem ụzọ ise, ebe o kewara ngụgọ ụzọ anọ dika e gosipụtara n’eserese a:

**Abụ ọnụ**

**Uri** **Mbem** **Ngụgọ**

**1 2 3 4 5 6 7 8 9** **1 2 3 4 5** **1 2 3 4**

| **Uri** | **Mbem** | **Ngụgọ** |
|---|---|---|
| 1. Uri ọmụmụ nwa | 1. Mbem akwamozu | 1. Ilu na gwamgwam gwam |
| 2. Uri ọlụlụ nwaanyị | 2. Mbem echichi | 2. Ịgọ ndụ |
| 3. Uri akwamozu | 3. Mbam afa | 3. Akwamozu |
| 4. Uri echichi | 4. Mbem mmọnwụ | 4. Mmọnwụ |
| 5. Uri iku nwa | 5. Mbem nta | |
| 6. Uri egwu ọnwa | | |
| 7. Uri oriri na ọṅụṅụ | | |
| 8. Uri mmọnwụ | | |
| 9. Uri agha | | |

**Nnwale Onwe 2**

Tụlee ụzọ ndịọkammụta Igbo sirila mee nkenụdị abụ ọnụ Igbo

## 1.5 Uru Abụ Ọnụ Bara na Ndụ Ndị Igbo

Abụ ọnụ bara uru n'ihi na ọ na-arụ ọrụ dịiche iche na ndụ ndịIgbo.
Ọrụ abụ na-adịkwarị iche site n'otu obodo ruo n'ibe ya, nakwa, site n'otu ọnọdụ ruo n'ọnọdụ ọzọ. N'otu aka ahụ kwa, ọrụ abụ ọnụ na-ehibekwa isi n'ụdịrị abụ ọ bụ. Iji maa atụ, mbunuche abụ arịrị ọnwụ bụ ịgosịpụta mwute. Ihe niile a mụrụ na modul 1, yuniti 5, 3.1-3.5 dịka mbamuru agụmagụ ọnụ bụchakwa uru abụ dịka otu n'ime nkenụdị agụmagụ ọnụ. Ndị a bụ ọrụ abụ ọnụ ndị ọzọ nkeụfọdụ bụkwa ndị a rụtụrụla aka na mbụ.

1. E ji ya akụzi ihe: Site n'abụ ọnụ, ọkpọabụ na-agbasa ozi dị mkpa maka ntolite na ọdimma obodo. A na-esikwa na ya na-agbasa agụgụala na amamihe obodo.
2. E ji ya agbazi mmekọrịta ọhaobodo. E jikwa ya agbazi akparamagwa ndị mmadụ. Abụ ikpe maọbụ nkọcha, na nke otito na-enye aka iji emezi ndị na-eme omume ọjọọ n'obodo.
3. E ji ya akwalite omenala ndị n'ihi na ndị mmadụ na-agba, na-agụkwa egwu nnanna ha, omenala ha na-adịrị gawa.
4. A na-ejikwa ya eto maọbụ akọcha ụdị ọchịchị maọbụ ndịọchịchị
e nwere n'obodo. N'ihi nke a, ọ na-enye aka ime ka e nwee mgbanwo n'ihe gbasara ọchichị, na-emekwa ka ọchịchị dị chịm.
5. E ji ya eme ndị mmadụ obi ụto.Abụ ọnụ adịghị eme ndị mmadụ obi ụto abaghị uru ọbụla.
6. Abụ akwa/arịrị na abụ arịrị ọnwụ na-abụ ụzọ isi egosịpụta mwute, bụrụkwa ụzọ e si akasi ndị mmadụ nwụnahụrụ obi.
7. E ji abụ agha emesi ndị mmadụ obi ike ka ha wee kpaa ike n'agha.
8. Abụ ịhụnanya na-eji ụdị asụsụ na-egosị ịhụnanya na nkwadowe alụmdi.
9. Abụ ụmụaka bụ iji agụgụ ụmụaka, mee ka ha rahụ ụra.
10. Abụ ofufe bụrụ iji akwalitesi ike okwukwe ndị mmadụ n'ofufe ha.

**Nnwale Onwe 3**

| |
|---|
| Nyochaa n'uju uruabụ ọnụ bara n'ala Igbo |

## 1.6 Nchịkọta

Site n’ihe anyị mụrụ na yunit a, o doola anya na ndị Igbo bụ ndị hụrụ abụ n’anya nke ukwuu. Ọtụtụ ihe ha na-eme bụkwa nke ha na-eji abụ dị iche iche ezipụta. Nke a pụtara ihe n’ụdị abụ ọnụ dị iche iche ndị Igbo nwere. Anyị hụkwara na ọ bụghị naanị ịkpa obi ọma ka abụ ndị a na-eme na ndụ ndị Igbo, kama na e nwere uru ndị ọzọ dị iche iche abụ ọnụ na-arụ na ndụ ndị Igbo. Mgbe a na-ekwu maka abụ ọnụ na ndụ Igbo, ọ bụ ụdị agụmagụ ọnụ kacha pụta ihe na ndụ ndị Igbo maka na ndị Igbo nwere abụ maka ihe niile na-eme na ndụ ha. Ihe ndị Igbo were dịka abụ abụghị naanị abụ ndị edere ede maka na mgbe ndị Igbo malitere ndụ ka abụ malitere. Ihe ọbụla a ga-ewe dịka abụ n’agụmagụ Igbo ga-abụrịrị nke dị n’ahịrị n’ahịrị maọbụ n’ọgbara nwere ndanusoro, ma bụrụ nke a na-ekwe ekwe, agụ agụ maọbụ ekwu ekwe. Anyị hụkwara na yunit a, na ọtụtụ ndị ọkammụta e kewaala abụ n’ụzọ dị iche iche mana nkọwa nke chịkọtara ha niile bụ nkọwa ọkammụta Ụzọchukwu nyere bụ nke ọ nọrọ sị na abụ ọnụ Igbo niile ga-adabarịrị n’okpuru; egwu, mbem na ngụgọ. Anyị hụkwazịrị uru dị iche iche abụ bara na ndu ndị Igbo.

## 1.7 Nrụtụaka/Ngụmi


Uzochukwu, S. (1982). Features of Igbo Oral Poetry. In Ugonna, N. (Ed.), *Igbo*: Journal of SPILC, No.1, Lagos: Department of African Languages and Literatures, University of Lagos.

Uzochukwu, S. (1992). *Abụ Akwamozu*. Uruowulu-Obosi: Pacific Publishers.

Ugonna, N. (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*. Lagos: Longman Nigeria.

Nwadike, I. U. (1992) *Ntọala Agụmagụ*. Ifunanya Publishers.


## 1.8 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a:Azịza Nnwale Onwe 1

**1.** Ụfọdụ kọwara abụ dịka nkọwapụta pụrụ iche mmadụ jiri aka ya nye banyere etu ihe siri metụta ya na mmụọ. Ndị ọzọ sịkwa na abụ bụ okwu ọbụla aghaziri nke ọma nke nwere ndanusoro nke e ji asụsụ pụrụ iche ezipụta. *Longman Dictionary of Contemporary English* kọwara abụ dịka nkenke ederede e dokọro n’usoro ahịrị na ụda nke ji asụsụ enyouche ewepụta mmetụtaobi dị omimi, echiche maọbụ ahụmihe mmadụ. Na nkọwa nke ya gbasara ihe bụ abụ, Ugonna sịrị na ihe anyị ga-akpọ abụ abụghị naanị ihe e depụtara edepụta (abụ ederede), kamaọbụkwa okwu e dokọro kwupụta ya n’ọnụ nkịtị. Ọ gara n’ihu kọwaa abụ dịka okwu dị n’ahịri n’ahịrị

maọbụ n'ọgbara nwere ndanusoro (rhythm) a na-ekwe ekwe, agụ agụ maọbụ ekwu ekwu

2. A nụrụ olu nwa e-e-e!
A-a-e-e-e !
Onye nụrụ akwa nwa
Me ngwa ngwa
Ọ bụghị ofu onye nwe nwa.

## YUNIT 2 AKỤKỌ ỌDỊNỊGHA ỌDỊNALA

**Ndịna**

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2. 3 Ndịna Kpọmkwem
  2.3.1 Nkọwa AkụkọỌdịnịgha Ọdịnala
2.4 Nkenụdị AkụkọỌdịnịgha Ọdịnala Igbo
  2.4.1 Nkọmịrịkọ
  2.4.2 Nkọkịrịkọ
2.5 Ifo
  2.5.1 Ụkabụilu
  2.5.2 Gịnị bụ Ifo
2.6 Njirimara Ifo
2.7 Nkenụdị Ifo
  2.7.1 Ihe Mmụta dị n'Ifo
2.8 Nchịkọta
2. 9 Nrụtụaka/Ngụmi
2.10 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ



### 2.1 Mkpọlite

Na yunit 1, anyị lebara anya n'abụ ọnụ, nkenụdị ya na uru ọ bara na ndụ ndị Igbo. Na yuniti a, anyị ga-eleba anya n'akụkọọdịnigha ọdịnala Igbo.



### 2.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- kọwaa ihebụakụkọọdịnigha ọdinala na njirimara ya.
- mụta na akụkọọdịnigha ọdinala Igbo bụotu n'ime nkenụdịagụmagụ ọnụ Igbo.
- marakwa ụzọ dị iche iche e nwere ike isi mee nkenụdị akụkọọdịnigha ọdinala Igbo

- kwuo uru akụkọọdịnigha ọdịnala Igbobara na ndụ ndị Igbo.

## 2.3 Ndịna Kpọmkwem

### 2.3.1 Nkọwa AkụkọỌdịnịgha Ọdịnala

Akụkọ ọdịnala bụ akụkọ dị iche iche ndị Igbo ji egosipụta ahụmihe na nkwenye ha n'ihe dị iche iche. N'oge ochie, ndị Igbo e nweghị uzo agụmakwụkwọ tọrọ atọ dịka ọ dị ugbu a, ọ bụ akụkọ ọdịnịgha dị iche iche ka ha ji wee na-akọwapụta nkwenye ha banyere etu ọtụtụ ihe sịrị dị nke ọtụtụ n'ime ha gbadoro ụkwụ n'iji kuzie ihe. Nke a mere na ndị Igbo nwere ụdị akụkọ ọdịnala dị iche iche ha ji ezipụta nghọta ha. Akụkọ ọdịnala ndị Igbo bụ nke na-agbadokarị ụkwụ n'ihe gbasara n'ala mmadụ, n'ala ụmụ mmụọ nakwa n'ala anumanu, dịka na nsirihụụwa ha si dị.

## 2.4 NkenụdịAkụkọ Ọdịnịgha Ọdịnala

Mgbe anyị na-ekwu maka nkenụdị akụkọ ọdịnịgha ọdịnala Igbo ihe anyị na-arụgara aka bụ ụdịdị akụkọ dị iche iche e nwere. Ihe mere ikuzi nkenụdị ndị a jiri dị mkpa bụ na nke ọbula nwere ihe ọ na-akọ maka ya. Ndịa bụ Ọdịnịgha Ọdịnala Igbo (Igbo Traditional Prose Narratives):

i Nkọmịrịkọ(myths)
ii. Nkọkịrịkọ (legends)
iii. Ifo (folktales)
iv. Ụkabụilu (anecdotes)

### 2.4.1 Nkọmịrịkọ

Ndị mgbe ochie bụ ndị nwere ekereuche dị ịtụnanya. Ndị Griik mgbe ochie bụ ọmụmaatụ ndị gosịpụtara agwara a. Ha lere anya na kpakpando wee hụ onyonyoo - ọdụm, nnụnụ, akatamkpo, akpị, dgz. Ha lee anya n'anyanwụ wee chee na ọ bụ anyịnya igwe na-atụ egwu a na-anyafe n'ihu anyanwụ ụbọchị niile. Ha hụ amụma sị na Zeus, onye na-ezite egbeigwe na-atụdasị mkpụrụ egbeigwe.

*Nkọmịrịkọ* na-akọwakarị gbasara ndụ na ọnwụ na ihe ọdịnachi ga. Nkọmịrịkọmetụtakwara ofufe. Nke a mere e ji ekwu mgbe ụfọdụ na nkọmịrịkọ dị asọ. Nkọmịrịkọ na-arụtụ aka n'ihe gbasara epumepu ụwa, okike eluigwe na ụwa na ihe kpatara ihe ụfọdụ ji dị etu ha dị.Iji maa atụ,

etu ụwa na igwe si bụrụ ihe ndị e kewapụrụ n'ebe onwe ha dị. Ha na-emetụta ihe dị nnukwu mkpa dịka ọbịbịa ọnwụ n'ụwa na ihe omimi gasi dịka ndọrọndọrọ eziihe na ajọihe, ìhè na ọchịchịrị.

Ndị nnanna anyị ha ji nkọmịrịkọ akọwa ihe ọbụla taara ha akpụ nghọta. Iji maa atụ, ebe ọ bụ na ha aghọtaghị ụdịdị kpakpando na ọnwa nke ọma, ha mewe nkọmịrịkọ gbasara ha. Nke a mere e ji ahụ na ndị ọbụla n'ụwa nwere akụkọ dị iche iche ha ji akọwa ọtụtu ihe e nwere n'ụwa. E nwere ndị nwere akụkọ gbasara ihe e ji nwee oge oyi na oge ekpomoọkụ, ihe mere e ji nwee mmiri maọbụ ndagwurugwu ebe ụfọdụ. N'ọnọdụ enweghi nghọta maọbụ na e nwere obi abụọ gbasara ọtụtụ ihe, ọ dị mkpa ịkọwa ihe ndị ahụ. Nke a bụ otu uru nkọmịrịkọ bara n'Afrịka.

Nkọmịrịkọ nwere ọrụ dị iche iche ha na-arụ ebe ọbụla a na-akọ ha. Ha na-akụzi ihe, akwalitekwa mmekọrịta, ha na-akụzi eziakparamagwa na-adọkwa ndị mmadụ aka na ntị gbasara ọghọm dị n'ịda iwu ọha.E jikwa akụko nkọmịrịkọ eme ndị mmadụ obi ụto. Dịka akụkọ ndị ọzọ ọ na-abụkarị na mgbede ka a na-akọ ya mgbe ndị mmadụ richarala nri.

### 2.4.2 Nkọkịrịkọ

Nkọkịrịkọ bụ akụkọ gbasara emereme merela eme, ndụ ndị mmadụ birila n'oge etebeghị nnukwu aka. Nkọkịrịkọ na-akọkari maka agụgụala ezinaụlọ, ogbe na obodo. Ndị na-akọ akụkọ a n'onwe ha na-ekwenye na akụko ndị a bụ eziokwu maọbụ na ha bụ ihe mere eme na ndụ mmadụ eziokwu.

Nke a na-emetụtakarị agugụala. Ha na-akụzi eziakparamagwa dịka ifo mana ha na-arụtụkarị aka na ndụ mmadụ n'eziokwu. Mgbe ụfọdụ nkọkịrịkọ na-enwetụ eziokwu na ya. Ha nwere ike gwa anyị gbasara ndị mmadụ birila ndụ n'eziokwu maọbụ gbasara ụfọdụ ihe mere eme n'eziokwu. Mana a na-akọ ha, a na-ewebata arọmarọ. Na nkọkịrịkọ ụfọdụ, a na-egosị etu mmadụ na ọkammadụ siri bikọọ. Obodo ọbụla n'Afrịka, tinyere Igbo, nwere nkọkịrịkọ gbasara epumepu ha, ndị izizi hibere obodo ha, odogwu dị iche iche meriri ihe siriike iji hụ na e hibere obodo ha. N'oge ụfọdụ, a na-abọwa ndị odogwu a dịka ndị buru ibu pụrụ iche, ndị nwere agwara ụmụmmụọ na ọkammadụ ndị ọzọ. Mgbe ụfọdụ a na-emebe ndị odogwu a arụsị, ya bụ, a na-ewere ha ka arụsị.

### 2.5 Ifo

Ifo bụ akukọ ọdịnala a na-akọkarị karịa akụkọ ọdịnala ndị ọzọ.Akuko ifo gbasaghị epumepu ụmụihe ọdịnala na agụgụala dịka e nwere na nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ. Ha na-ekwukarị maka ọnọdụ ndị ogentị maara maọbụkwanụ kpọghachi echiche n'ụfọdụ omenala ochie dịka ụdị e si eri

ekpe, amụ nwa na alụ nwaanyị. Mgbe ụfọdụ kwa, njirimara akụkọ nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ na-abanyekwa n'akụkọ ifo.
Ọtụtụ ihe mmụta gbasara eziomume ụmụaka na-amụta na-esi n'akụkọ ifo. Ifo na-ejupụta n'ihe nkụzi. Ọ na-enwekarị nkụzi na-eme obi ụto, na-egosịpụtakwa ka mmadụ siri merie ihe isiike site n'inwe maọbụ enweghị enyemaaka ọkammadụ.

Ifo bara ọtụtụ uru. E wepụ ikuzi ihe, a na-esi na ya aghọta gbasara omenala ndị Afrịka maka na a na-eji ha egosị ụdị obibi ndụ na nkwenye ndị obodo, ọkachasị ndị ime obodo.Iji maa atụ, akụkọ ifo Igbo na-ewepụtagasị ka ndị Igbo si ekpe ezi ikpe, nkwenye ha n'ihe dị iche iche, ikikere ha inwe ndidi.A na-enwekari ebe na oge pụrụ iche e ji akọ akụkọ ifo ka ọ wee baruo ndị na-egentị na mmụọ. Ọ na-abụkarị n'abalị mgbe ọnwa na-etika e ji akọkarị akụkọ ifo. Ọ bụ ihe e ji eme ụmụaka obi ụto na mgbede mgbe ụmụaka gbakọrọ gbaa ọkọọ gburugburu igere akụkọ ya. Ike na-agwụ ọtụtụ ụmụaka mgbe ha rụchara ọrụ n'ụbọchị dịka ọrụubi, ma ihe ndị ọzọ. Ha richaa nri abalị, ha chere ka a kọọrọ ha akụkọ ifo tupu ha hie ụra.Ha nwere ike ịnọrọ n'ute a gbasara n'ala maọbụ n'ala nkịtị ebe ọkọọ na-anọ n'etiti ha. N'ihi na ike agwụgo ụfọdụ ụmụaka ndị a, ọkọọ na-agba mbọ ime ka akụkọ ya na-ekpo ọkụ, atọ ụtọ iji chụpụ ụra n'anya ha. E nwere ike iji ụfọdu ihe egwu akwalite akụkọ a mgbe ụfọdụ.

Ọkọọ na-eṅomikarị mmegharịahụ agwa dị n'akụkọ ha nakwa emereme e nwere n'afọ. Ndịogentị na-esonyekwa n'akụkọ site n'ịgụ egwu, ịkụ, ịgba na ụmụ ngwaegwu ndị ọzọ iji kwalite ejije dị n'akụkọ. Ụzọ e si amata ka akọmakọ si aga nke ọma bụ site ka o si emetụta ụmụaka na-ege ya. A na-atụ anya na ha ga-amụta ọtụtu ihe amamihe site n'akụkọ ndị ahụ, sitekwa n'akụkọ ndị a mata omenala, ọdịnala na ofufe obodo ha.Ọkọọ na-agba mbọ ịhụ na ụmụaka na-ege ya ntị maka ihe mmụta ndị a jupụtara n'akụkọ ya. Kedụ ihe ọkọọ nwere ike ime iji kpalite mmụọ ụmụaka tupu ọ malite akụkọ ya.

### 3.5.1 Ụkabụilu

Ụkabụilu bụ ilu e tinyere n'ụdị nwa nkenke akụkọ nke e ji akuzi ihe. Ọ na-enwe agwà, nke nwere ike ịbụ agwa mmadụ maọbụ ụmụanụmanụ. A naghị akọ ya ka akụkọ ifo; a na-ewebata ya na mkparịtaụka dịka ilu nkịtị. Iji maa atụ, "Mbe na Mbgada" N'ụkabụilu a, "Mbe kpọrọ Mgbada ka o keere ya na ụmụ anụ ndị ọzọ anụ ha gburu. Mgbada jụọ Mbe ka ya ga-esi kee ya. Mbe sị Mgbada mewe uche ya. Ọ bụrụ ya kpọọ ya(Mgbada) ikere ha oke ụbọchị ọzọ, ọ mara na o ketara nke okere."Na mmechi ụkabụilu, a na-ekwukarị: "nke a bụrụ ilu bụrụ ụka."

**Nnwale Onwe 1**
Jiri ezigbo omumaatụ kọwaa ụdị akụkọ ọdịnala niile ndị Igbo nwere.

### 2.5.2 Gịnị bụ Ifo?

Ụfọdụ mmadụ ghọtara ya na ‘ifo’ bụokwu chịkọtara ụdị akụkọ ọdịnala Igbo ndịa niile. Mana dịka e gosiri n’elu,ifo bụ otu n’ime nkewa e nwere n’agụmagụ ọnụ (ọdịnala) Igbo. N’ebe a, anyị ga-elebakwu ifo anya n’uju. Ifo bụ akụko ọdịnala, akụkọ ọnụ ndị Igbo na-akọrọ onwe ha. Ọ na-abụkarị akụkọ arọrọ arọ. Ọ na-esi n’aka fere aka maọbụ nwata tota o tokwuru. Ha na-akọ ya iji mee onwe ha obi ụtọ. a na-akọkarị ya n’oge mgbede.
Ifo bụ akụkọ ọdịnala ndị Igbo na-akọrọ onwe ha iji mee ka a na-enwe obiaṅụrị tụmadị mgbe a na-enwe ezumike n’oge mgbede maọbụ e richaa nri abalị. Ifo bụ akụkọ e mewere iji kuziere mmadụ, tụmadị ụmụaka ihe. Ọ bụ akụkọ a rọrọ arọ, y abụ, akụkọ mmadụ chepụtara n’isi ya. Ifo bụ akụkọ na-esi n’aka fere n’aka maọbụ ihe anyị ga-akpọ nwanwa tote o tokwuru.

### 2.6 Njirimara Ifo(Features/Characteristics of Ifo Tale)

Ihe ọbụla n’ụwa nwere ihe e ji mara ya. Ihe ndị a na-esonue bụ ihe ndị e ji mara ifo Igbo

i. Ifo Igbo bụ ekwuru n’ọnụ.
ii. Ọ bụakụkọ arọrọ arọ.
iii. Ọtụtụ ihe na-eme n’ifo, dịka ihe enweghị ike ime eme na-eme n’ifo.
iv. Ifo Igbo na-enwe onye ọkọọ akụkọ na ndị ogentị.
v. A na-enwekarị mgbanwe n’akụkọ ifo maka na ọbụ akụkọ ọnụ. mgbanwe a nwere ike bụrụ
a) Mgbanwe agwa (change of character) ịma atụ “Ọjaadịlị” (hụ *akwụkwọ* ifo *Omalinze*) na “Erem Ọkamgba” (hụ akwụkwọ ifo *Ọka Mgba*). A bịa n’akụkọ abụọ a, ha abụọ bụ otu akụkọ ma isiagwa dị na ha dị ichiiche.
b) Mgbanwe okwu (change of thought)
c) Ala ebe ifo a nọrọ mee na-agbanwekwa
vi. Asụsụ ifo na-adịkarị mfe n’ihi na ọbụ ụmụaka ka ebu n’uche akọ ya bụ akụkọ, n’ihi nke a, ilu na akpalaokwu agaghị adị ya. Ọ bụrụ na ha adị ya, ụmụaka agaghị aghọta ifo ahụ, maka n’echiche ha etolitebeghị.

Ọzọkwa, ifo na-enwe asusụ ifo e ji akọya maka na ọ bụrụ na e were asụsụ dị ntụhị kọ akụkọ ifo, ụmụaka ndị ebu n’uche wee kọọ ya agaghị aghọta ya.

vii. Ifo bụ akụkọ na-akụziri ụmụaka na ndị okenye ihe dịka eziomume, ịhụnanya, obi ebere, anyaukwu adịghị mma, dgz.
viii. Ifo na-enwe mmalite na ngwụcha iji mee ka ndị mmadụ gee ntị. Ya bụ, ifo na-enwe usoro mmalite na mmechi.

**Nnwale Onwe 2**

| |
|---|
| "Ihe niile dị n'ụwa nwere ihe e jiri mara ya". I kwenyere na okwu a dabara n'ebe ifo dị? Were atụ dabara kwado nkọwa gị. |

## 2.7 Nkenụdị Ifo

Mgbe anyị na-ekwu maka nkenụdị ifo, ihe anyị na-arụgara aka bụ ụdịdị ifo dị iche iche. Ihe mere ikuzi nkenụdị ndị a jiri dị mkpa bụ na akụkọ ifo niile nwere ihe ọ na-akọ maka ya, nke nwere ike bụrụ maka mmadụ, anụmanụ maọbụ mmụọ. O nwekwazịrị ike ọ bụrụ maka mmadụ kpara ike n'ala mmadụ, ala anụmanụ nakwa n'ala mmụọ dịka e nwere n'akụkọ "Ọjaadịlị". Ugbua, anyị ga-azọbanye ụkwụ na nkenụdị ifo ndịa iji ghọta ebe ọtụtụ n'ime ha gbadoro ụkwụ.

Ọ dị ụzọ dị iche iche e nwereike iji mee nkenụdị ifo. Ha bụ ndị a:

1. **Site n'ịgbado ụkwụ na agwa:**
   a) E nwere ifo bụ maka agwa mmadụ na ibe ya,
   b) Agwà ụmụanụmanụ na ibe ha.
   ch) Agwà mmadụ na anụmanụ.
   d) Agwà mmadụ na mmụọ.
   e) Agwà mmadụ, mmụọ na ụmụanụmanụ, na
   f) Agwà anụmanụ na mmụọ, dgz.

2. **Site nịgbado ụkwụ n'ala éméréme:**
   a) E nwere ifo e mere n'ala mmadụ,
   b) Ala mmụọ,
   ch) Ala ụmụanụmanụ
   d) Ala mmadụ na anụmanụ,
   e) Ala mmadụ, ala ụmụanụmanụ na ala mmụọ

3. **Site n'isiokwu dị n'ifo dịka:**
   a) Ịhụnanya,
   b) Obi ebere,
   ch) Anyaukwu
   d) Akpọmasị
   e) Umengwụ
   f) Okeọchịchọ
   g) Amamiihe, dgz.

4. **Site n'ụdị akụkọ etu ifo ahụ dị, ya bụ ụdịrị ifo dịka:**

a) Akụkọ ekwemekwe, na
b) Ifo bụ naanị akụkọ na okwukwe

**5. Site n’etu e siri dee akụkọ ifo:**

a) E nwere ifo dị n’ọgbara (Abụ ifo) (poem). Nkea na-akọwa gbasara ifo bụ sọosọ abụabụ/ukweukwe. N’abụ ahụ ka akụkọ ifo ahụ ga-esi pụta. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* ia. 34 “Nwakatimkpọrọ” *Ọmalịnze* ia. 168 “Mkpụrụ jim m”.

b) E nwere abụ so ifo, ifo dị n’ọdịnịgha (prose). Abụ so ifo na-akọwa ifo ọ ga-abụ efotụ, abụtụ abụ. Ọmụmaatụ: *Nza na Obu* ia. 8, *Ọmalịnze* ia 7 “Nnụnụ Nwooye”.

**6. Site n’ụdị akukọ ifo ahụ dị (ụdị akụkọ ọ bụ)**

a) Akụkọ nkịtị, ya bụ iduu nkịtị. Nke a bụ akụkọ na-akọwa maka eze a naghị achị ọchịchị nchigbu. Ọ na-alụ ọtụtụ ụmụnwaanyị.

Nwanwoke na-abụ mkpa ya. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* ia 1 “Ọmalịnze”, *Nza na Obu*,i.a. 69.

b) Akụkọ iduu, ya bụ iduu kpoo. Iduu kpoo na-akọwa maka ọchịchị eze Bini a na-akpọ iduunọba. Ọ bụ eze na-chị ọchịchị nchịgbu. Ọ na-emesi ndị ọ na-achị ike na egbukwa ha. O nwere ndị odibo ọ na-akpọ Mgbaraọtọ, Ogbungwangwa, Ọraọbara na Afọejuala. Ha ncha nwechara ọrụ ha na-arụrụ ya n’obodo. A na-enwe odogwu mmadụ na ya. Onye ahụ ga na-agba eze mgba na-agwa ya n’ọchịchị ya adịghị mma. Ọ ga-achọ ụzọ ọ ga-esi gbuo odogwu ahụ site n’izije ya njemegwu ebe ọ ga-anọ nwụ.Mana odogwu ahụ ga-aga njemegwu ahụ lota, ma chịba ndị obodo. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* ia 22 “Enendụ Igboanugo, nwa ka nna ya” *Nza na Obu* ia. 10 “Udeze”, *Nza na Obu* ia 47 “Ndidi na-emeri ihe ụwa”, *Ọmalịnze* ia. 75 “Ọjaadịlị”.

ch) Akụkọ maka okike ụwa (Nkọmịrịkọ). Nke a na-akọwa maka okike ụwa, ọnwụ na ndụ, okike ihe niile ndị ọzọ na-abụghị mmadụ mọọbụ anụmanụ mere. Ọmụmaatụ *Nza na Obu* ia. 5 “Ihe kpatara ụmụnwaanyị ejighi agba afụọnụ”, *Ọmalịnze* ia. 200 “Etu ọnwụ siri bịa n’ụwa”, dgz.

**Nnwale Onwe 3**

| |
|---|
| 1. Olee ụzọ dị iche iche e nwere ike ịgbakwasa ụkwụ eme nkenụdị ifo? |

### 2.7.1 Ihe Mmụta dị n’Ifo

E wepụ iji ifo mee obi ụtọ nke bụ otu n’ime mbunuche e ji akọrọ anyị akụkọ ifo, mbunuche ọzọ dị oke mkpa bụihe akụkọ ifo ahụ kụziiri anyị n’ihi na ifo bụ otu ụzọ ọdịnala ndị Igbo si akụziri ụmụaka ihe. Mgbe

ụfọdụ, a na-eji ifo akụziri ndị okenye ihe.Ihe mmụta jupụtara n'akụkọ ifo Igbo. Mgbe anyị na-ekwu maka ihe mmụta dị n'ifo, anyị na-ekwu maka ihe ọkọọ bu n'uche were akọrọ anyị akụkọ ifo ahụ. Ya bụ e ji ifo akuzi ihe ọma na ihe ọjọọ, ezi omume na ajọ omume. Uru na-esi n'ime eziomume apụta ebe ọghọm na-esi n'ime ajọ omume apụta.

Ọ na-egosikwa anyị ịhụnanya n'ihi na ọ bụ maka ụmụaka ka e ji akọ ya. Ya bụ, a ga-ewepụta ihe ọma ụmụaka ga-esi n'akụkọ ifo ahụ wee mụta. Ihe dịka, ọ bụrụ nwata a chọrọ ka ọ na-ege nne na nna ya ntị, a ga-ewepụta akụkọ ga-egosị etu nwata nupụụrụ nne na nna ya isi, site n'ịga ebe nne na nna ya sịrị ya agana siri zute ọnwụ n'ụzọ, dgz.

## 2.8 Nchịkọta

Na yunit a, anyị mụrụ ọtụtụ ihe banyere akụkọ ọdịnala. Anyị ghọtara na akụkọ ifo Igbo bụ otu n'ime ụdịrị akụkọ odinigha ọdịnala Igbo. Anyị gara n'ihu kọwaa maka 'ifo' n'ụzọ pụrụ iche site n'ịkpọtụkwa ụkwụ na njirimara nakwa nkenụdị ifo dị iche iche. A ga-echeta na nkenụdị ifo ndị a dịka anyị siri mụọ gbadoro ụkwụ n'ihe akụkọ ahụ na-ekwu maka ya maọbụ ihe mebere usoro akụkọ ifo ahụ. Anyị mụkwara maka ihe mmụta ndị si n'ifo apụta. Anyị mụrụ maka akụkọ ọdịnala n'ụdị doro anya na yunit a. Anyị hụrụ nkọwa akụkọ ọdịnala Igbo. Nkuzi anyị na yunit a mepekwara anya anyị ịghọta ụdị akụkọ ọdịnala dị iche iche ndị Igbo nwere. A kuzikwaara anyị na yunit a maka akụkọ ifo dịka otu na ngalaba agụmagụ ọdịnala n'ụzọ pụrụ iche.

## 2.9 Nrụtụaka/Ngụmi


Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Ifunaya Publishers.


## 2.10 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a:

**Azịza Nnwale Onwe 1**

Ndịa bụ Ọdịnịgha Ọdịnala Igbo (Igbo Traditional Prose Narratives):

i Nkọmịrịkọ(myths)
ii. Nkọkịrịkọ (legends)
iii. Ifo (folktales)

iv. Ụkabụilu (anecdotes)

**Nkọwa ha:**

i. Nkọmịrịkọ

Ndị mgbe ochie bụ ndị nwere ekereuche dị ịtụnanya. Ndị Griik mgbe ochie bụ ọmụmaatụ ndị gosịpụtara agwara a. Ha lere anya na kpakpando wee hụ onyonyoo - ọdụm, nnụnụ, akatamkpo, akpị, dgz. Ha lee anya n'anyanwụ wee chee na ọ bụ anyịnya igwe na-atụ egwu a na-anyafe n'ihu anyanwụ ụbọchị niile. Ha hụ amụma sị na Zeus, onye na-ezite egbeigwe na-atụdasị mkpụrụ egbeigwe.

*Nkọmịrịkọ* na-akọwakarị gbasara ndụ na ọnwụ na ihe ọdịnachi ga. Nkọmịrịkọmetụtakwara ofufe. Nke a mere e ji ekwu mgbe ụfọdụ na nkọmịrịkọ dị asọ. Nkọmịrịkọ na-arụtụ aka n'ihe gbasara epumepu ụwa, okike eluigwe na ụwa na ihe kpatara ihe ụfọdụ ji dị etu ha dị.Iji maa atụ, etu ụwa na igwe si bụrụ ihe ndị e kewapụrụ n'ebe onwe ha dị. Ha na-emetụta ihe dị nnukwu mkpa dịka ọbịbịa ọnwụ n'ụwa na ihe omimi gasi dịka ndọrọndọrọ eziihe na ajọihe, ìhè na ọchịchịrị.

Ndị nnanna anyị ha ji nkọmịrịkọ akọwa ihe ọbụla taara ha akpụ nghọta. Iji maa atụ, ebe ọ bụ na ha aghọtaghị ụdịdị kpakpando na ọnwa nke ọma, ha mewe nkọmịrịkọ gbasara ha. Nke a mere e ji ahụ na ndị ọbụla n'ụwa nwere akụkọ dị iche iche ha ji akọwa ọtụtu ihe e nwere n'ụwa. E nwere ndị nwere akụkọ gbasara ihe e ji nwee oge oyi na oge ekpomoọkụ, ihe mere e ji nwee mmiri maọbụ ndagwurugwu ebe ụfọdụ. N'ọnọdụ enweghi nghọta maọbụ na e nwere obi abụọ gbasara ọtụtụ ihe, ọ dị mkpa ịkọwa ihe ndị ahụ. Nke a bụ otu uru nkọmịrịkọ bara n'Afrịka.

ii. Nkọkịrịkọ

Nkọkịrịkọ bụ akụkọ gbasara emereme merela eme, ndụ ndị mmadụ birila n'oge etebeghị nnukwu aka. Nkọkịrịkọ na-akọkari maka agụgụala ezinaụlọ, ogbe na obodo. Ndị na-akọ akụkọ a n'onwe ha na-ekwenye na akụko ndị a bụ eziokwu maọbụ na ha bụ ihe mere eme na ndụ mmadụ eziokwu.

Nke a na-emetụtakarị agugụala. Ha na-akụzi eziakparamagwa dịka ifo mana ha na-arụtụkarị aka na ndụ mmadụ n'eziokwu. Mgbe ụfọdụ nkọkịrịkọ na-enwetụ eziokwu na ya. Ha nwere ike gwa anyị gbasara ndị mmadụ birila ndụ n'eziokwu maọbụ gbasara ụfọdụ ihe mere eme n'eziokwu. Mana a na-akọ ha, a na-ewebata arọmarọ. Na nkọkịrịkọ ụfọdụ, a na-egosị etu mmadụ na ọkammadụ siri bikọọ. Obodo ọbụla n'Afrịka, tinyere Igbo, nwere nkọkịrịkọ gbasara epumepu ha, ndị izizi hibere obodo ha, odogwu dị iche iche meriri ihe siriike iji hụ na e hibere obodo ha. N'oge ụfọdụ, a na-abọwa ndị odogwu a dịka ndị buru ibu

pụrụ iche, ndị nwere agwara ụmụmmụọ na ọkammadụ ndị ọzọ. Mgbe ụfọdụ a na-emebe ndị odogwu a arụsị, ya bụ, a na-ewere ha ka arụsị.

iii. Ifo

Ifo bụ akukọ ọdịnala a na-akọkarị karịa akụkọ ọdịnala ndị ọzọ.Akuko ifo gbasaghị epumepu ụmụihe ọdịnala na agụgụala dịka e nwere na nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ. Ha na-ekwukarị maka ọnọdụ ndị ogentị maara maọbụkwanụ kpọghachi echiche n'ụfọdụ omenala ochie dịka ụdị e si eri ekpe, amụ nwa na alụ nwaanyị. Mgbe ụfọdụ kwa, njirimara akụkọ nkọmịrịkọ na nkọkịrịkọ na-abanyekwa n'akụkọ ifo. Ọtụtụ ihe mmụta gbasara eziomume ụmụaka na-amụta na-esi n'akụkọ ifo. Ifo na-ejupụta n'ihe nkụzi. Ọ na-enwekarị nkụzi na-eme obi ụto, na-egosipụtakwa ka mmadụ siri merie ihe isiike site n'inwe maọbụ enweghị enyemaaka ọkammadụ.

iv. Ụkabilu

Ụkabụilu bụ ilu e tinyere n'ụdị nwa nkenke akụkọ nke e ji akuzi ihe. Ọ na-enwe agwà, nke nwere ike ịbụ agwa mmadụ maọbụ ụmụanụmanụ. A naghị akọ ya ka akụkọ ifo; a na-ewebata ya na mkparịtaụka dịka ilu nkịtị. Iji maa atụ, "Mbe na Mbgada" N'ụkabụilu a, "Mbe kpọrọ Mgbada ka o keere ya na ụmụ anụ ndị ọzọ anụ ha gburu. Mgbada jụọ Mbe ka ya ga-esi kee ya. Mbe sị Mgbada mewe uche ya. Ọ bụrụ ya kpọọ ya(Mgbada) ikere ha oke ụbọchị ọzọ, ọ mara na o ketara nke okere."Na mmechi ụkabụilu, a na-ekwukarị: "nke a bụrụ ilu bụrụ ụka.

**Azịza Nnwale Onwe 2**

2. Ihe niile dị n'ụwa nwere ihe e jiri mara ya, ọkacha n'akụkọ ifo. Lee ọmụmaatụ:

Aghụghọ -Mbe
Ịkpa ike – Agụ
ọsọ ọsọ -ele
nwayọ nwayọ -ejule, dgz.

**Azịza Nnwale Onwe 3**

Ọ dị ụzọ dị iche iche e nwereike iji mee nkenụdị ifo. Ha bụ ndị a:

1. Site n'ịgbado ụkwụ na agwa:
   a) E nwere ifo bụ maka agwa mmadụ na ibe ya,
   b) Agwà ụmụanụmanụ na ibe ha.
   ch) Agwà mmadụ na anụmanụ.
   d) Agwà mmadụ na mmụọ.
   e) Agwà mmadụ, mmụọ na ụmụanụmanụ, na
   f) Agwà anụmanụ na mmụọ, dgz.

2. Site nịgbado ụkwụ n'ala éméréme:
   a) E nwere ifo e mere n'ala mmadụ,
   b) Ala mmụọ,

ch) Ala ụmụanụmanụ
- d) Ala mmadụ na anụmanụ,
- e) Ala mmadụ, ala ụmụanụmanụ na ala mmụọ

3. Site n'isiokwu dị n'ifo dịka:
   - a) Ịhụnanya,
   - b) Obi ebere,
   - ch) Anyaukwu
   - d) Akpọmasị
   - e) Umengwụ
   - f) Okeọchịchọ
   - g) Amamiihe, dgz.

4. Site n'ụdị akụkọ etu ifo ahụ dị, ya bụ ụdịrị ifo dịka:
   - a) Akụkọ ekwemekwe, na
   - b) Ifo bụ naanị akụkọ na okwukwe

5. Site n'etu e siri dee akụkọ ifo:

a) E nwere ifo dị n'ọgbara (Abụ ifo) (poem). Nkea na-akọwa gbasara ifo bụ sọosọ abụabụ/ukweukwe. N'abụ ahụ ka akụkọ ifo ahụ ga- esi pụta. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* ia. 34 "Nwakatimkpọrọ" *Ọmalịnze* ia. 168 "Mkpụrụ jim m".

b) E nwere abụ so ifo, ifo dị n'ọdịnịgha (prose). Abụ so ifo na-akọwa ifo ọ ga-abụ efotụ, abụtụ abụ. Ọmụmaatụ: *Nza na Obu* ia. 8, *Ọmalịnze* ia 7 "Nnụnụ Nwooye".

6. Site n'ụdị akukọ ifo ahụ dị (ụdị akụkọ ọ bụ)

a) Akụkọ nkịtị, ya bụ iduu nkịtị. Nke a bụ akụkọ na-akọwa maka eze a naghị achị ọchịchị nchigbu. Ọ na-alụ ọtụtụ ụmụnwaanyị.

Nwanwoke na-abụ mkpa ya. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* ia 1 "Ọmalịnze", *Nza na Obu*,i.a. 69.

b) Akụkọ iduu, ya bụ iduu kpoo. Iduu kpoo na-akọwa maka ọchịchị eze Bini a na-akpọ iduunọba. Ọ bụ eze na-chị ọchịchị nchịgbu. Ọ na-emesi ndị ọ na-achị ike na egbukwa ha. O nwere ndị odibo ọ na-akpọ Mgbaraọtọ, Ogbungwangwa, Ọraọbara na Afọejuala. Ha ncha nwechara ọrụ ha na-arụrụ ya n'obodo. A na-enwe odogwu mmadụ na ya. Onye ahụ ga na-agba eze mgba na-agwa ya n'ọchịchị ya adịghị mma. Ọ ga-achọ ụzọ ọ ga-esi gbuo odogwu ahụ site n'izije ya njemegwu ebe ọ ga-anọ nwụ.Mana odogwu ahụ ga-aga njemegwu ahụ lota, ma chịba ndị obodo. Ọmụmaatụ: *Ọmalịnze* ia 22 "Enendụ Igboanugo, nwa ka nna ya" *Nza na Obu* ia. 10 "Udeze", *Nza na Obu* ia 47 "Ndidi na-emeri ihe ụwa", *Ọmalịnze* ia. 75 "Ọjaadịlị".

ch) Akụkọ maka okike ụwa (Nkọmịrịkọ). Nke a na-akọwa maka okike ụwa, ọnwụ na ndụ, okike ihe niile ndị ọzọ na-abụghị mmadụ mọọbụ anụmanụ mere. Ọmụmaatụ *Nza na Obu* ia. 5 "Ihe kpatara ụmụnwaanyị ejighi agba afụọnụ", *Ọmalịnze* ia. 200 "Etu ọnwụ siri bịa n'ụwa", dgz.

## YUNIT 3 EJIJE/EGWUREGWU ỌDỊNALA

**Ndịna**

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọmkwem
 3.3.1 Nkọwa Ejije Ọdịnala
 3.3.2 Mmọnwụ dịka Ndịnụdị Ejije Ọdịnala
3.4 Nkenụdị Ejije Ọdịnala Igbo
3.5 NjirimaraEjije Ọdịnala
3.6 Ọrụ/Uru Ejije Ọdịnala
3.7 Nchịkọta
3.8 Nrụtụaka/Ngụmi
3.9 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

### 3.1 Mkpọlite

Na yunit 2, anyị lebara anya n'akụkọọdịnigha ọdinala Igbo, nkenụdị ya, njirimara ya na uru ọ bara na ndụ ndị Igbo. Na yuniti a, anyị ga-eleba anya n'ejije ọdinala Igbo – nkọwa ya, nkenudi ya, njirimara ya na uru ọ bara.

### 3.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- kọwaa ihebụejije ọdinala
- mụta na ejije ọdinala Igbo bụotu n'ime nkenụdịagụmagụ ọnụ Igbo na njirimara ya.

- marakwa ụzọ dị iche iche e nwere ike isi mee nkenụdị akụkọọdịnigha ọdinala Igbo
- ghota mbamuru ejije ọdinala Igbona ndụ ndi Igbo.

## 3.3 Ndịna Kpọmkwem

### 3.3.1 Nkọwa Ejije/Egwuregwu Ọdịnala (Traditional Drama)

E si n’okwu Griik bụ *Dran* nweta okwu a bụ ejije nke pụtara ‘ime’. Aristotle kọwara ejije dịka ‘njije nke emereme’ (imitation of an action). Site na nkọwa a, Aristotle ahụghị emereme n’onwe ya dịka ejije kama dịka nnọchianya emereme (imitation of reality and not reality itself, a representation of life). ‘Ejije’ n’onwe ya bụ okwu e sitere na ‘njije’ nweta. Etu Aristotle siri kwu, ihe kacha mkpa n’ejijje bụ ihe njije. Ọ ga-enwerịrị ihe a na-ejijemaọbụ ihe a na-eṅomitupu a kpọọ ihe ọbụla ejije; ihe ahụ a na-eṅomi nwere ike bụrụ mmadụ,ndụ mmadụ, mmụọ, ihe, ihe mere n’ụwa, nkọmịrịkọ, wdg. N’ihi nke a, njirimara kacha gba elun’ejijebụ nṅomi (mimeosis).

*Encyclopaedia Americana* kọwara ejije dịka “ụdịrị agụmagụ e bu n’uche ka ndi omeka gosịpụta ya. A kọwakwara ejije dịka “agụmagụ e mewere maka obom ebe ndị omeka na-eweghara ihe àgwà na-eme, gosị emereme a chọrọ nwekwaa nkọrịta. Nkọwa ọzọ e nyekwara ejije bụ: ndị mmadụ igosịpụta ọnọdụ mmadụ maka mmadụ ndi ọzọ.

Ejije ọdịnala bụ ejije/egwu dị n’ala. Ya bụ, ọ bụ egwu dị iche iche ndị Igbo nwere a na-egosi n’obom, iro, ama, ọgbụ, dgz. E nwere egwu ụmụ ntakịrị, ya bụ, ụmụ ntakịrị nwoke maọbụ nwaanyị. E nwekwara egwu ndị inyom maọbụ nke nwoke maọbụ nke nwaanyịdịka Egedeege, Mkpọkịtị, Atịlịọgwụ na ọtụtụ ndị ọzọ. E nwekwara nke agwaraọgwa ya bụ nke nwoke na nwaanyị nọ na ya.

Ejije/egwu ọdịnalaanaghị adị n’ụdị ederede nke ndị omenka ga-agụ tupu ha bịa mepụtawa ihe ha gụtara kama ejije ọdịnala na-agbakwasị ụkwụ n’ekereuche nke ndị omenka bụ nke ha na-akọ n’ọnụ na-eleghị anya n’akwụkwọ ọbụla.Ejijeọdịnalana-esokari mmemme maọbụ emume ọdịnaladị iche iche apụta. Ọ bụ nke a mere e ji elegara ufodu emereme ọdịnala Igbo anya dịka ejije. Ihe ọzọ bụ na dịka ngalaba agụmagụ ọdịnala ndị ọzọ, ejije ọdịnala na-achọkarị ndị maọbụ onye omenka na ndị nkiri, iji mee ka o zuo oke. Nke a mere na mgbe a na-emepụta ejije ọdịnala, a na-enwe onye na-eme njije, nke nwere ike bụrụ mmọnwụ maọbụkwanụ ndị na-agba egwu ọdịnala ma nwekwazie ndị nkiri na-elele ihe onye maọbụ ndị ahụ na-eme ejije ma na-esonyekwa. Ndị mmadụ, ma agadi, ma ụmụaka na-enwe mmasị ikiri ejije ọdịnala.

Ejije si na njije (imitation). Okwu a bụ njije zuru Igbo ọnụ. Ejije bụ nṅomi, ihe Aristotle kpọrọ "mimesis". O kwuru na tupu a kpọọ ihe ejije, ọ ga-enwe ihe nṅomi (element of imitation). Ejije ọdịnala bụ egwuregwu dị iche iche ndị Igbo ji eṅomi ihe werekwa ya na-enye onwe ha obi aṅụrị. Site n'ihe Aristotle kwuru maka ejije, anyị agaghị asị na ihe niile bụ egwuregwu ọdịnala bụ ejije. Ọ bụ mmọnwụ dị n'udị ejije ọdịnala. Mmọnwụ na ejije niile dị iche iche ka a na-akpọ ndịnụdị mmọnwụ ka anyị ga-agbakwasị ụkwụ mgbe anyị na-ekwu egwuregwu ọdịnala.

### 3.3 2 Mmọnwụ dịka Ndịnụdị Ejije Ọdịnala

Ejije, dịka e kwuru na mgbago, bụokwu e siri na 'njije' maọbụ nṅomi wee nweta. Ejije mmọnwụnke na-enwe ụmụ ihe njije maọbụ ihe nṅomin'ime yazipụtara agwara maọbụ njirimara kacha gba elu (hụ **3.4** n'okpuru) n'ihe niile anyị ga-ewe dịkaejijeọdịnala Igbo.Ọ gbakwasịrị ụkwụ na nkwenye ndị Igbogbasara ndi nwụrụ anwụ. E kwenyere na mmọnwụ pụtara*mmụọ ọnwụ*, mmụọ nna nna anyị ha ndị nwụrụ anwụ.Mmọnwụ bụ ejije n'ihi na ọbụ ihe e eji ejije/eṅomimmụọ nnanna anyị ha ndị nwụrụ anwụ. Ndị Igbokwenyere na mmụọ ndị a na-apụta kwamgbe kwamgbe ka ha na ndị dị ndụ nwee mmekọrịta, ya bụ, anyị ga-asị na ejije mmọnwụbụ nṅomi a na-eṅomi ndị nwụrụ anwụiji gosịpụta mmekọrịta dị n'etiti ha na ndị dị ndụ.

Ugonna, n'akwụkwọ ya kọwara na mmọnwụ bụ egwuregwunke ndị Igbo kwenyere na ndị eworewo dị na ya bụ ụmụmmụọ. Egwuregwu mmọnwụbụ egwuregwu dị asọ,bụrụkwaihe onye ọbụla na-asọpụrụ.Ọ bụ nke a mere natupu mmadụ e soro nammọnwụ, ọ ga-ebu ụzọ maa mmọnwụ, nke pụtara na onye ahụ ga-ebugodu ụzọ banye n'otu mmọnwụ. Mmọnwụ bụ egwuregwu dị omimi n'ala Igbo. Ebe a na-anọ egosị egwuregwu ọdịnala ka a na-akpọ Obom (theatre) maọbụ mbara, ama, iro nkebụ, ebe sara mbara a na-aza aza nakwa edobe ya ọcha,dgz. Ebe a bụ ebe ndịoleeanya/ndịnkiri(spectators) na-anọ okirikiri ma hapụ ohere n'etiti ebe ndị omenka (actors) ga-anọwee na-emepụta ejije. Ohere a ha na-ahapụ n'etiti ka a na-akpọ 'ọgbọ'. Ịgba mgba abụghị ejije maọbụ egwu ọdịnala.A na-ewe mmọnwụ dịka ejije ọdịnala n'ihi na ọ na-eṅomi ndị nwụrụ anwụ, ihe ha na-eme na ka ha si eme ihe.

**NNWALE ONWE 1**

1. Gịnị bụ ejije ọdịnala?
2. Egwuregwuọdịnala niile ha bụ ejije? Were ọmụmaatụ dabara adaba

kwado nkọwa gị.
3. Kedụ ihe mere e jiri were mmọnwụ dịka ejije ọdịnala?

## 3.4 Nkenụdị Ejije Ọdịnala Igbo

Ọ bụ ezie na ọtụtụ ndị ọkammụta n'agụmagụ Igbo enyela nkọwa dị iche iche banyere nkenụdị ejije ọdịnala, otu onye nkọwa ya banyere nkenụdị ejije ọdịnala dabara nkeọma bụọkammụta Ugonna, onye kọwara na e nwere ike ikewa ejije ọdịnala ụzọ atọ pụtara ihe, nke gụnyere:

1. **Egwụ ụkpọrọ/nkịtị(Ordinary dance):N**dị a na-arụgara akan'ebe a bụndị egwu na-agba egwu iji megharịa ahụ, dàtá ego maọbụ mee ndị mmadụ obiụtọ. Ndị na-agba egwu a, anaghị ekpuchi ihu ha, kama ha nwere ike tee nzu n'ahụ iji chọọ onwe ha mma iji ga-eme ka ndị mmadụ nwee mmasị n'egwu ha na-agba.
2. **Egwu eworewo:** N'ebe a, ndị egwuregwu na-eji ihe egwu wochie ahụ ha. Ndị na-egosị ya bụ ndị eworewo.Ndị egwu a na-eyikwa uwe dị iche achọrọ mma, mana ha anaghị ekpuchi ihu ha. Ndị na-elele egwu ha nwere ike ịhụ ha ma matakwa ndị ha bụ.
3. **Mmọnwụ:** Nke a bụ egwuregwu ndị Igbo kwenyere na ndị eworewo bụ ndị mmụọ.A naghị ahụ ndị kpuru mmọnwụ anya. Onye na-amaghị mmọnwụ maọbụ nwaanyị enweghịkwa ike ịmetụ mmonwu aka ma ọ nọrọ n'ọgbọ. Ọ bụrụ na onye na-amaghị mmọnwụ metụ mmọnwụ ahụ aka maọbụ luso onye kpu mmọnwụ ọgụ, a na-asị na onye ahụ ataala mmọnwụ. Ihe butere nke a bụ na dịka anyị kọwaburu gbasara mmọnwụ, ndị Igbo na-ahụta mmọnwụ dịka mmụọ ndị nwụrụ anwụ. Ọ bụkwa ya mere ndị mmọnwụ ji ejije ndị nwụrụ anwụ. Mgbe a na-eti mmọnwụ, ndị mmọnwụ na-agaọgarịga ije ka mmụọ, na-ama mbem iji gosi amamihe ndị nna nna anyị ha, na-ekwukwa okwu n'ụdị dị aṅaa iji gosi na ha bụ mmụọ. Ọ bụ ihe ndịa niile mere ndị Igbo ji were mmọnwụ ka ihe dị asọ ma bụrụkwa ejije.

Nkenụdị ejije ndị ọzọ e nwere gụnyere nkeNwadike (1992:27-29) *Ntọala Agụmagụ,* wepụtara:

4. Ejije mmọnwụ
5. Ejije Ụmụaka: Nke a bụ ụdị ejije ụmụaka na-eji ejije ndị mụrụ ha, ndị okenye nakwa ihe ọbụla ha hụrụ na-eme na gburugburu ha.
6. ejije mgba,
7. ejije agha,
8. ejije ntọaja:

## 3.5 Njirimara EjijeỌdịnala

Njirimara ndị a ga-eleba anya ebe a metụtara ma ejije ọdịnala ma ejije ugbu a. N’ihi ya, enwena mgbagwojuanya ma a kpọọ agụmagụ ugbu a aha.

1. **Nṅomi:** Ihe izizi a na-enwe tupu a kpọọ ihe ọbụla ejije bụ nṅomi, dịka a kọwara n’elu. E nwere ọtụtụ ihe e nwere ike iji mee njije a. Ụdịrị ekike na-eso ewepụta nṅomi, àgwà na ihe ndị ọzọkwa na-ewepụta nṅomi ebe anyị̀ maara na ejije abụghị ihe na-eme mgbe ahụ kama o nwere ike bụrụ ihe mere ọtụtụ afọ gara aga ka a na-eṅomi.

2. **Akụkọ:**Ejije ọbụla ga-enwe akụkọ, ma n’ejije ọdịnala, a na-egosị ihe a na-eme egosị. Ọ naghị enwe otu ọkọọ.Ejije na-akọrọ anyị akụkọ nke nwere ike bụrụ akụkọ gbadoro ụkwụ na nkọmịrịkọ, nkọkịrịkọ, ifo; nweekwa ike bụrụ akukọ gbasara agha, ịhụnanya, njemegwu, ọdachi dgz.A na-enwe nkọmịrịkọ (myth), nkọnilu (allegory) ebe ihe a na-eme ga-anọchite anya ihe na-eme eme n’ụwa maọbụ kụzie ezigbo omume, onye mgbaama na ụkabụilu.A na-enwe akụkọ n’ụdị akụkọ ala, ya bụ, ihe gbasara ala.A ga-enwe ‘ngwe’ (text) n’ejije ugbua mana nke ọdịnala bụ nke ọnụ. Ọ na-agbanwe agbanwe maka na ọ bụghị etu onye nke ọzọ si kọọ ya ka onye nke ọzọ ga-esi kọọ. Ọ bụ ewetaetii (episodic structure).A na-enwe ejije ọdịnala n’ụdị emume. Ọ bụghị nke e ji achọ ego kaejije ndị ọcha. Ọ bụ nke ndị mmadụ na-abụ e mesịa, ha alawa.

3. **Nkọrịta:** Ebe ejije ọdịnala siri dị iche bụ na ebe odee maọbụ otu àgwà na-akọrọ anyị akụkọ n’iduuazị, akụkọ ejije na-esite n’ọnụ ndị omeka na-apụta. Mgbe ndị omenka na-akọrịtara onwe ha akụkọ, anyị na-esi n’ọnụ ha aghọta akụkọ ahụ, dịka e nwere n’ejije ụmụaka nakwa ejije mmọnwụ ụfọdụ.E nwere ekwumekwu (speech) n’ụdị abụ. Ọ dị iche na nke ndị ọcha maka na nke anyị a na-agụ ya agụ. O nweghị ndịnotu n’ihi n’ọtụtụ ihe na-abata na ya. A na-enwe njije, ịgụ egwu, ịgba egwu, isiélélé (ime amansi) mọọbụ ime ngala, dgz.

4. **Ndọkụrịta:** Etu e si enwe ndọkụrịta na ndụ mmadụ bụ etu e si enwe ya n’ejije. A na-enwekwa ndakọrịta (conflict) n’etiti ndị mmọnwụna ndị oleanya. Ndọkụrịta na-adị ụzọ abụọ. O nwere ike bụrụ ndọkụrịta mpụta ihe maọbụ ndọkụrịta nke ime mmụọ. Na nke ime mmụọ, otu àgwà na-enwe ndọkụrịta a n’ime onwe ya. O nwere ike bụrụ n’ihe ọ na-achọ ime maọbụ nke o merela eme. Na nke mpụta ihe, ndọkụrịta na-abụ n’etiti àgwà na ibe ya etu ọ dị n’etiti Oguamalam na Ikekwem Ọkpụrụka n’akwụkwọ *Oguamalam.*

**5.** **Omeka/Àgwà:** Ejije na-enwe ndị omeka (actors).N'ejije ọdịnala, ndị omenka na-abụ àgwà nọ n'ejije ahụ. Ọ naghị adị ka ejije ederede ebe ode ejije ga-etinye okwu n'ọnụ agwa nọ n'ejije ahụ, kama ndị omenka maọbụ omenka nọ n'ejije ọdịnala na-eji aka ha mepụta maọbụkwanụ kwupụta ihe dị ha n'obi na-ebughị ụzọ gụọ ihe ha ga-ekwu maọbụ mepụta tupu ha mepụtawa ya.

N'ejije ederede/ugbu a, ana-enwe nzipụta àgwà ndị e kwenyere na a pụrụ ịnwe ha n'ezie. Odee ejije anaghị àgwá ndị nkiri okwu n'onwe ya. Ya kpatara ọ na-eji esi na mkparịtaụka (nkọrịta), ejije mmeghariahụ dị iche iche egosị àgwà na ihe ha bụ. A ga-enwe ndị omenka ga na-egosị anyị ihenkiri. A na-enwe onyeisi agwa nke emereme niile gbabedoro/hidoro isi na ndụ ya nwekwaa agwa ndị ọzọ ya na ha ga-enwe mmekọrịta.

**6.** **Obom:** Ihe niile na-eme n'ejije ọdịnala bụ na-emekarị obom. Kaosiladị, ọ bụghị naanị n'obom ka a na-anọ emepụta ejije ọdịnala, e nwekwazịrị ike ịnọ n'ama egwuruegwu, n'ọgbọ obodo maọbụ n'ebe ọbụla obodo wepụtara maka imepụta emereme ọbụla. N'ebe a, ndịnkiri na-esonye n'ihe a na-eme;ndị mmadụ na ibe ha ana-enwe mmekọrịta.

Ọ bụrụ n'ejije ederede, ihe niile a na-eme n'ejije ga na-abụ n'elu *nkwago*. N'ejije ugbua, ndị nọ n'elu nkwago bụ ndị omeka ndị ụwa ha dị iche na nke anyị. N'ejije ugbua, ndị nkiri na ndị omenka anaghị anọ n'otu agbata.

**7.** **Ndịnkiri:** A na-enwekwa ndịnkiri, ya bụ, ndị na-ekiri ihe a na-eme n'obom.A ga-enwerịrị ndịnkiri n'ejije ọdịnala. Ọ bụ ha ka ndị omeka na-emere ihenkiri n'obom maọbụ n'ọgbọ ebe ndị omenka n'onwe ha na-anọ, ndinkiri agbaa ha okirikiri. Ndịnkiri ejije ọdịnala anaghị anọ jụụ dịka e nwere na nke ederede, ha na-esonye n'emereme site n'ịkụ aka, ịgba egwu na itu aha maọbụkwanụ itu ego.

**8.** **Obinkonelu:** Etu emereme si apụta na-ekowe ndị ogentị/ndịnkiri obi n'elu, dika mgbe a na-esi èlèlè maọbụ eme anwansì na ọ̀dịièshi n'ejije ọdịnala. Obinkonelu na-agba elu n'ejije ederede mgbe ndịọgụụ na-achọ ịmata ihe mere n'ikpeazụ. Etu odee siri wepụta obinkonelu na-eso egosị ụdịrị mmasị ndị mmadụ ga-enwe n'ebe ejije ahụ dị.

**10.** **Isiokwu:**Nke a bụ ozi gbara ọkpụrụkpọ omeejije/odeejije na-ezi ndịnkiri.Ejije ọdịnala ọbụla emepụtara na-enwekarị isiokwu ọ na-agbado ụkwụ na ya.O nwere ike bụrụ nkọmịrịkọ ala mmụọ.

11. Ọ na-enwe oge e ji eme ya. Ọ na-akwalite mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. .

## 3.6 Uru Ejije Ọdịnala Bara

Ejije ọdịnala nwere ọtụtụ uru e si na ya enweta. Ndị mmadụ na-enwe mmasị ije kiri ejije ọdịnala iji mee onwe ha obi ụto. Mgbe ndị omenka na-eme ihe ngosị dị iche iche, ha na-eme ka ndị mmadụ mata n’ebe maọbụ mgbe/oge ha ga-eme ya.

A na-esi n’ejije ọdịnala enwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya (social interaction). Ndị Igbo tụrụ n’ilu sị “Onye nọrọ naanị ya, ogugu a magbuo ya”. Nke a gosịrị na onye ọbụla na-aga ekiri ihe nkiri a, n’ihi ịnwe mmekọrịta nke ejije ọdịnala na-enye.

Ọ na-emekwa ka mmadụ hụrịta onwe ha n’anya. Site na mmekọrịta a, ụmụ okorobịa na ụmụagbọghọbịa nwere ike hụta onye ha ga-alụ.

Ejije ọdịnala na-akwalitekwa mmekọrịta obodo n’ibe ya. Ọ na-enyekwa aka iweta udo n’obodo site n’ịkwalite ndịnotu nke na-eweta udo n’obodo.

## 3.7 Nchịkọta

Na yunit a, anyị mụrụ maka ejije ọdịnala dịka otu ngalaba agụmagụ ọnụ bara oke uru. Na yunit a, anyị mụrụ maka njirimara ejije ọdịnala, ụdịdị ya, nakwa ọrụ ọ na-arụ. Ihe ọzọ dịka mkpa anyị mụrụ na yunit a bụ na ejije mmọnwụ bụ ejije ọdịnala kacha pụta ihe karịa ejije ndị ọzọ.

Anyị ghọtara na yunit a na ihe ọbụla a ga-akpọ ejije ọdịnala ga-abụrịrị ihe na-egosi ṅnomi agwa. N̄nomi àgwà a nwere ike bụrụ àgwà mmadụ maọbụ àgwà mmụọ dịka ọ dị n’ejije mmọnwụ. Anyị matakwakwa ihe ndị e jiri mara ejije ọdịnala Igbo, ụdị ejije ọdịnala dị iche iche nke ejije mmọnwụ kacha wee pụta ihe. O dokwaala anyị anya site n’ihe anyị mụtara na yunit a na ọ bụghị emereme omenala niile ndị Igbo na-eme bụ ejije. Anyị hụkwara uru ejije ọdịnala bara na ndụ nakwa n’obodo.

## 3.8 Nrụtụaka/Ngụmi

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Ifunaya Publishers.

Ugonna, Nnabuenyi (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*. Ikeja: Longman Nigeria

Emenanjo, Nolue (1989). *Atumatu Agumagu na Atumatu Okwu*. Ikeja: Longman Nigeria Ltd.

**3.9 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 1**

1. Ejije ọdịnala bụ ejije/egwu dị n'ala. Ya bụ, ọ bụ egwu dị iche iche ndị Igbo nwere a na-egosi n'obom, iro, ama, ọgbụ, dgz. E nwere egwu ụmụ ntakịrị, ya bụ, ụmụ ntakịrị nwoke maọbụ nwaanyị. E nwekwara egwu ndị inyom maọbụ nke nwoke maọbụ nke nwaanyịdịka Egedeege, Mkpọkịtị, Atịlịọgwụ na ọtụtụ ndị ọzọ. E nwekwara nke agwaraọgwa ya bụ nke nwoke na nwaanyị nọ na ya.
2. Egwuregwu Ọdịnala niile abụghị ejije, kama na ụfọdụ na-akpa agwa ka ejije. Egwu ọnwa ụmụ aka na-egwu ha ji anọrị oge abụghị ejije, dịka ịchụ ọsọ maọbụ izo nzuzo maọbụkwanụ ụdị egwu ọbụla ha na-egwu na-enye ha obi aṅụrị nagbanyeghị na amaghị onye malitere ya maọbụ oge o ji bido mana ọ ka na-atọ ha ezigbo ụtọ.
3. Ihe mere e jiri were mmọnwụ dịka ejije ọdịnala bụ maka na ndị mmụọnwụ na-eti mmụọnwụ iji jijee ndị mmụọ.

# MODUL 4 NNYOCHAAGỤMAGỤ ỌNỤ

Yunit 1 Nnyocha AbụỌnụ
Yunit 2 NnyochaAkụkọ/Ọdịnịgha Ọdịnala
Yunit 3 Nnyocha Ejije/EgwuregwuỌdịnala

## YUNIT 1 NNYOCHA ABỤ ỌNỤ

**Ndịna**

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọmkwem
1.4 Ndịnaabụ ọnụ
  1.4.1 Echiche
  1.4.2 Mmetụtaobi
1.5 Ọdịdị abụ ọnū̄
  1.5.1 Ndokọ abụ ọnū̄
  1.5.2 Ndanusoro
  1.5.3 Asụsụ
1.6 Nchịkọta
1.7 Nrụtụaka/Ngụmi
1.8 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

### 1.1 Mkpọlite

Na Modul 3, anyị lebara anya na nkenụdị agụmagụ ọnụ. A kọwara na e kewara agụmagụ ọnụ (ọdịnala) Igbo ụzọ atọ ndịa gbara elu: abụ ọnụ/ọdịnala, akụkọọdịnịgha ọdịnala, na ejije/egwuregwu ọdịnala. Na Modul nke 4 a, anyị ga-eleba anya na nnyocha agụmagụ ọnụ; were ọmụmaatụ kụzie ụzọ e si enyocha ụdị agụmagụ ọnụ (ọdịnala) Igbo atọ ndị anyị kpọrọ aha n'elu.


### 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- mụta etu e si enyocha abụ ọnū̄
- itule ndịna abụọnụ.
- inyocha ọdịdị abụ Igbo, wepụtagasịa ihe ndị a chọrọ

## 1.3 Ndịna Kpọmkwem

Ọ dị ụzọ ihe abụọ a na-eleba anya mgbe a na-enyocha abụ ọbụla. Ihe ndị a bụ ndịna abụ na ọdịdị ya.




## 1.4 NdịnaAbụ Ọnụ

A bịa na ndịna abụ, ihe a na-eleba anya bụ echiche na mmetụtaobi dịka eserese dị n'elu gosiri. Ka anyị lebamie ihe abụọ ndịa anya n'otu n'otu.

**Nnyocha Abụ**
Mgbe a na-enyocha abụ ọbụla, ọ dị ụzọ ihe abụọ anyị na-eleba anya. Ihe ndị a bụ:

**1.** Ndịna (content)
**2.** Ọdịdị (form)

A bịa na ndịna, ihe anyị na-eleba anya bụ echiche (thought) na mmetụtaobi (emotion). Echiche dị n'abụ bụ ihe ọkpọabụ chọrọ iji echiche ya gosị anyị. Ya bụ, ihe ọkpọabụ chọrọ ka ndị ogentị ghọta bụ ihe o bu n'uche were abụ ya bụ abụ. Echiche na-arụtụkarị aka n'ihe gbasara ụwa, ahụmiihe (experience), ọnwụ na ndụ, onye okike na ihe o kere, agha, udo, ọlụlụ nwaanyị, mmọnwụ, nwa dgz.
N'aka nke ọzọ, mmetụtaobi a na-enwe n'abụ na-adị iche iche, nke olena ole n'ime ha bụ ndị a: egwuọtụtụ, ọṅụ, iwe, arịrị, akpọmasị (hatred), ịhụnanya, dgz.

### 1. 4. 1 Echiche

Echiche dị n'abụ bụ ihe ọkpọabụ chọrọ iji abụ ya akọwa, ya bụ, ihe ọ chọrọ ka ndị ogentị ghọta, echiche ọkpọabụ si n'abụ ya ewepụta. I nwekwara ike were ya ka isiokwu ya. Echiche dị n'abụ ga-arụtụrịrị aka n'ihe gbasara ụwa, ahụmiihe mmadụ, ọnwụ na ndụ, onye okike na ihe o kere, agha na udo, dgz. Iji maa atụ, gụọ abụ ọlụlụ nwaanyị a na-esonu nke e ji ya kọwàdà ihe a na-ekwu:

**1. Aya mbaye**

Aya mbaye mbaye,
*Aya mbaye*;
Aya mbaye nwata nwaanyị,
*Aya mbaye*;
A na-agwa gị gewe ntị,
*Aya mbaye*;
Ị ma na egeghị ntị na-apụta ụka
*Aya mbaye*;
O ru ụtụtụ sị zawa ụlọ,
*Aya mbaye*;
Maka na azaghị ụlo na-apụta ụka
*Aya mbaye*;
Ị zachaa ụlọ gị siwe nri,
*Aya mbaye*;
Maka esighị nri na-apụta ụka,
*Aya mbaye*;
I sichaa nri gị jewe ọlụ,
*Aya mbaye*;
Maka na ejeghị ọlụ na-apụta ụka,
*Aya mbaye*;
Ị mara ihe dị mma gị mewere di,
Aya mbaye mbaye,
*Aya mbaye*
(Ogbalu, 1978. *Mbem na Egwu Igbo*, ihu akwụkwọ 11-12)

**2. Mgbeke**

Obere agbọghọ, obere ego,
Nnukwu agbọghọ, nnukwu ego,
Nwaokike, Okorie Ụgadaagụ,
Okorie na-egbu mgbada n'agụ̄,
Mgbeke nwa Ositadịrịmma,
Mgbeke na ute na-adịnụ mma,
E mewe agbọghọ ọ sụnyụwa anya,
Mgbe ọ ga-amụ nwa ọ kpọwa nne;
Mgbe ọ na-eme ihe ọ kpọkwara ya?

Abụ (1) dabara n'abụ ndụmọdụ ụmụagbọghọ na-agụrụ nwagbọghọ ibe ha mgbe ha na-edula ya ụlọ di ya. Uri a nwere ọtụtụ okwu ndụmọdụ n'ime ya nke rụtụrụ aka n'ihe dị iche iche nwunye kwesịrị ime n'ụlọ di ya. Ya bụ, echiche dị n'abụ a bụ na, nwagbọghọ na-ala na be di, ga-ebin'ụlọ di ya, kwesịrị ịdị na-ege (di ya) ntị, aza ụlọ, esi nri, eje ọrụ, emere di ya ihe dị mma maka na emeghị ihe ndị a na-ebute okwu na ụka n'ezinaụlọ.

Abụ (2) bụ abụ nkọcha. Ọ na-akọcha nwagbọghọ bụ Mgbeke, na-agba n'ezi; e leghị anya na-anara ego maka ihe ọ na-eme, nke na ọ tụụrụ ime mkpuke. Ọkpọabụ wepụtara echiche a ebe ọ sịrị na "Mgbeke na ute na-adịnụ mma". Ọ bụ nwagbọghọ anaghị azọ onwe ya azọ n'aka ụmụnwoke maka na ha "mewe" ya, "ọ sụnyụwa anya." Ọ na-ahapụrụ ụmụ nwoke onwe ya ka ha ji ya na-eme ihe masịrị ha mana o ruo"mgbe ọ ga-amụ nwa ọ kpọwa nne" ya; ya bụ, mgbe ọ hụrụ ihe ụfụ dị n'ịmụ nwa, o bewe akwa kpọkuwe nne ya. Ọkpọabụ ana-akọcha nwagbọghọ a site n'ịjụ ma"mgbe ọ na-eme ihe ọ kpọkwara ya?", ya bụ, nne ya – mgbe ahụ ya na ụmụnwoke na-edina ọ na-atọ ya.

### 1.4.2 Mmetụtaobi

Mgbe a na-ekwu maka mmetụtaobi abụ, ihe a na-elegara anya bụ etu abụ ahụ siri metụdebe anyị na mmụọ. Mgbe anyị gụrụ abụ ahụ, ọ mere ka iwe wee anyị, kaọbụ mee ka anyị nwee ọṅụ maọbụ nọdụ na mwute?Mmetụtaobi a na-enwe n'abụ dị iche iche nke ole na ole n'ime ha bụ ndị a: egwuọtụtụ (fear) mmeruweobi (pity) ọṅụ (joy) iwe (anger), arịrị (lament), mwute (sorrow), ịtụnanya (wonder), akpọmaasị (hatred) dgz.
A bịa n'abụ (1), anyị ga-asị na mmetụtaobi ya bụnke ọṅụ maọbụ obiụtọ na ịhụnanya n'ihi na idula nwagbọghọ n'ụlọ di ya na-abụ ihe aṅụrí nye ndị mmadụ; ndụmọdụ a na-enye ya bụkwa n'ihi ịhụnanya e nwere n'ebe ọ nọ. Mmetụtaobi abụ (2) wepụtara bụ nke akpọmasị, etu nwagbọghọ ji hapụ ịkwanyere onwe ya ùgwù nke meree jiri wereya mee ihe egwuregwu, ihe na-ebute nkọcha.

**Nnwale Onwe 1**

| Kọwaa ihe ghọtara dịka 'ndịna' abụ. |
|---|

## 1.5 Ọdịdị Abụ Ọnụ

A bịa n'ọdịdị abụ, ihe ndị a na-eleba anya bụ ndokọ, ndanusoro na asụsụ abụ nwere.

### 1.5.1 NdokọAbụ Ọnụ

Mgbe anyị na-ekwu maka ndokọ abụ, ihe anyị bu n'uche bụ etu ọkpọabụ siri chịkọta maọbụ hazi abụ ya. Ịma atụ, ndokọ uri (abụ ọdịnala) na-adịkarị ụzọ abụọ:

a nke ọzịza ozugbo
b nke ọzịza nchetụ maọbụ ọzịza naara oge.

**Ọzịza Ozigbo**

A bịa n'ọzịza ozugbo, ndị okwee (okweuri) na-ekwe ozugbo ọgụụ gụpụrụ na-enweghị nchetụ ọbụla. Ọzịza ozugbo a nwere ike ịdị n'ụdị dị iche iche. Mgbe ụfọdụ, ndị okwee na-ekwe ihe ọgụuri gụrụ na-enweghị mgbanwo, nke a ka a na-akpọ àgụèkwe. Ọmụmaatụ a ga-eji gosịpụta nke a dị na *Mbem na Egwu Igbo* i.a. 120, abụ 37.
**Abụ:** Nzọgbu! Nzọgbu! Enyi mba enyi bụ abụ ọzịza ozigbo.

A bịa n'abụ a, ndị okweuri na-ekwe ihe ọgụuri gụrụ na-enweghị nchetụ ọbụla. Ọzịza ozigbo a nwere ike ịdị n'ụdị dị iche iche. Mgbe ụfọdụ ndị okweuri na-ekwe ihe ọgụuri gụrụ na-enweghị mgbanwe ọbụla. Nke a ka a na-akpọ aguọekweedịka ọ dị n'abụ a na-esonu:

**2. Iwe**

Ọgụuri: Iwe! Iwe! Iwe!
Okweuri: Iwe
Ọgụuri: Iwe! Iwe! Iwe!
Okweuri: Iwe

N'abụ (3) a dị n'elu, a ga-ahụ na ọ nwere ndoko ọzịza ozigbo nke ndị okweuri na-ekwe ihe ọgụuri gụrụ na-agbanweghị okwu ọbụla.Ọmụmaatụ ọzọ dị na n'akwukwo Ụzọchukwu nke ọ kpọrọ*Traditional Funeral Poetry of the Igbo* ihuakwụkwọ 52.

3. Ọgụuri: Nnede mụ anya,nnede mụ anya.
Okweuri: Nnede mụ anya, nnede mụ anya.

**5. Olisa nye m nnwa**

Ọgụuri: Olisa nye m nnwa, nye m ego.
Okweuri: Olisa nye m nnwa, nye m ego.
Ọgụuri: Chukwu kere ụwa,nye m nnwa, nye m ego.
Okweuri: Chukwu kere ụwa,nye m nnwa, nye m ego.
Ọgụuri: Kama ị ga-awọ m nnwa, wọ m ego.
Okweuri: Kama ị ga-awọ m nnwa, wọ m ego.
Ọgụuri: Oge nnwa m kunitere, ego m ekunie.
Okweuri: Oge nnwa m kunitere, ego m ekunie.

N'abụ (4) na (5) a dị n'elu, a ga-ahụ na ọ nwekazịrị ndokọ ọzịza ozigbo nke ndị okweuri na-agbanweghị okwu n'ihe ọgụuri gụrụ.

N'aka nke ọzọ, mgbe ụfọdụ ndị okweuri na-ekwegharị ihe ọgụuri gụrụdịka ọ dị n'abụ a na-eso si n'akwụkwọ abụ*Mbem na Egwu Igbo,* ihụ.akw. 121, abụ 41.

**6** Ọgụuri: Ụbọchị anyị ga-eje mba
Okweuri: Udide

E lee anya na abụ (6) a dị n'elu, a ga-ahụ na ọ nwere ndokọ ọzịza ozigbo dịka ndị nke 3 na 4 mana ihe dị iche bụ na ndị okweuri anaghị ekwegharị ihe ọgụuri gụrụ kama ha gbanwere okwu nke ha.Nke a ka a na-akpọ àgụ èkweghari̩.Ọmụmaatụ ọzọ kọwara nke a bụ abụ a na-esonu:

**7. Ọ mụrụ nnwa gịnị**

Ọgụuri: Ọ mụrụ nnwa gịnị e?
Okweuri: Ọ mụrụ nnwa nwoke o.
Ọgụuri: Onye ji egbe o,
Okweuri: Bịawa nga o.
Ọgụuri: Ọ mụrụ nnwa gịnị e?
Okweuri: Ọ mụrụ nnwa nwaanyị o.
Ọgụuri: Onye ji ego o,
Okweuri: Bịawa nga o.
Ọgụuri: E ji gịnị azụ ya e ?
Okw: Ji na ede.
Ọg: Ihe e riwere,
Okw: E nye nnwa o.

E nwekwara ike ọgụuri a na-agbanwe okwu ya, okweuri a na-ekwe otu ihe.Iji maa atụ, ọmụmaatụ abụ (1) e nyere n'elu nwere ụdị ndokọ a. Na ya, "*Aya mbaye"* bụ ihe ndị okweuri na-ekwe mgbe niile ozugbo ọgụuri wepụrụ ọnụ n'ihe dị iche iche ọ na-agụ.
Mgbe ụfọdụ kwa, ndị okwee na-ekwe ihe dị iche na nke ọgụụ na-agụ.

**Ọzịza nchetu**

A bịa n'ọzịza nchetụ maọbụ nke naara oge, ndị okwee na-echetụ ka ọgụụ gụchaa ọtụtụ ahịrị tupu ha kwee. Nke a nwere ike ịdị n'ụdị dị iche iche. Mgbe ụfọdụ ndị okwee ga-echetụ ka ọgụụ gụchaa ọtụtụ ahịrị, ha nwa ekwekwaa ihe ọgụụ gụrụ na-enweghị mgbanwo ọbụla. Iji maa atụ,

**8. Ọ nụrụ onu nnwa**

Ọgụuri: Ọ nụrụ onu nnwa – ee,
Ọ nụrụ onu nnwa – ee,
Onye nụrụ onu nnwa mee ngwangwa.
Ọ bụ ofu onye nwe nnwa?
Okweuri: Ọ nụrụ onu nnwa – ee,
Ọ nụrụ onu nnwa – ee,
Onye nụrụ onu nnwa mee ngwangwa
Ọ bụ ofu onye nwe nnwa?

(Uzochukwu, 2006. *Traditional Birth Poetry of the Igbo*, ihu akwụkwọ 42) Ọmụmaatụọzọ kọwara nke a bụ abụ si n'akwụkwọ*Mbem na Egwu Igbo*, ihuakwu. 51 abụ 109

**9.** Ọgụuri: Nzọtọ nzọtọ ị zọrọ nwa n'ọkpa
Okweuri: Nzọtọ nzọtọ ị zọrọ nwa n'ọkpa
*Mbem na Egwu Igbo*, ihuakwu. 50 abụ 106

**10.** Ọgụuri: Ihe ọma mewere anyị kwa abalị,
Ihe ọma mewere anyị kwa abalị,
Ihe ọma mewere anyị kwa abalị,
Kwa abalị
Ma o rute m n'aka.
Okweuri: Ihe ọma mewere anyị kwa abalị,
Ihe ọma mewere anyị kwa abalị,
Ihe ọma mewere anyị kwa abalị,
Kwa abalị
Ma o rute m n'aka.

N'abụ (8, 9, 10) ndị a dị n'elu, a ga-achọpụta na ha nwere ndoko ọzịza nkwụsịtụ maọbụ naara oge nke ndị okwe kwere na-agbanweghị ihe ọbụla.

N'aka nke ọzọ, mgbe ụfọdụ kwa, ndị okwee nwere ike ịgbanwe ihe ọgụụ gụrụ ma ha chetụ ka ọgụuri gụọsịadịka ọ dị n'abụ a na-esonu.

**11. Ọmụmụ akọna m**

Ọgụuri: Mụ jewe ahịa Eke ha na-ajụ m nnwa e.
Mụ jewe ahịa Orie ha na-ajụ m nnwa e.
Mụ jewe ahịa Afọ ha na-ajụ m nnwa e.
Mụ jewe ahịa Nkwọ ha na-ajụ m nnwa e.
Ọmụmụ abụhọ ihe na-akọ nwaanyị.
Ka m mụtakwa nnwa o.
Okweuri: Nnwaakọna m nị.
Nnwaakọna m nị.
Nnwaakọna m nị o.
Nnwaakọna m.
Mgbe chi mụ kwelu m a mụọ.
Ọmụmụ akọna m nị.

(Uzochukwu, 2006. *Traditional Birth Poetry of the Igbo,* ihuakwụkwọ 18)

Ọmụmaatụ ọzọ dịkwa na*Mbem na Egwu Igbo,* ihuakwu. 22 abụ 12.

**12** Ọgụuri: Anyị bịara me nwa e e e e,
Anyị bịara me nwa e e e e
Okweuri: Nganga kwere anyị ukwe;
Ọgụuri: O ji anya achọ ụka nwa eze,
Nne m nwaanyị bịara ure nwa e e,
Okweuri: Nganga kwere anyị ukwe;
Ọgụuri: Kwenụ kwenụ,
Anyị eriele erie.

(Maka ọmụmaatụ ndị ọzọ, hụ *Mbem na Egwu Igbo,* ihuakwụkwọ 103, nọmba. 5; ihuakwụkwọ 184, nọmba. 17).

### 1.5.2 Ndanusoro

Mgbe anyị na-ekwu maka ndanusoro n'abụ, ihe anyị bu n'uche bụ ụdaolu egwu nwere mgbe a na-agụ maọbụ mgbe a na-agba ya. Abụ

nwere ike na-aga ọsịịso ọsịisọ maọbụ nwayọọ nwayọọ. Mana ọ bụ ụdị ahịrị e nwere n'abụ ga-akọwa ndanusoro di etu ọ ga-adị. Ahịrị dị nkenke, abụ na-aga ọsịịsọ ọsịịsọ mana ahịrị dị ogologo ọ na-aga nwayọọ nwayọọ. Ihe ndị na-ebute ndanusoro n'abụ Igbo, dịka Uzochukwu (2012) siri kọwaa, bụ:

i. Bịambịa Nkwụsị ikuru ume (recurrence of the breath-pause)
ii. Bịambịa Nhatanha oge n'ahịrị na-esote onwe ha (recurrence of equal time duration in consecutive lines)
iii. Bịambịa Echiche na-amajụ ibe ya (recurrence of sense balance)

Ka anyị lebaa ha anya n'otù n'otù.

### i Bịambịa Nkwụsị Ikuru Ume/Nkuume:

Dịka anyị kwuburu,n'abụ Igbo, ihe na-ewetakarị ndanusoro bụ ahịrị. Ihe na-eweta ahịri bụ nkwụsị nkuru ume. Mgbe ụfọdụ, nkwụsị nkuru ume na-adị nkenke. Ọ bụrụ na ọ dị nkenke, ihe ga-eso ya bụ ndanusoro ịga ọsịịsọ ọsịisọ (fast rhythm). Ya bụ, ọ bụrụ na nkwụsị ikuru ụme adị nkenke, ahịrị ga-adịkwa nkenke, nke a ga-ebute ndanusoro ịga ọsịịsọ. Mana ọ bụrụ na nkwụsị ikuru ume adị ogologo, ahịrị abụ ga-adịkwa ogologo. Ihe ga-esokwa ya bụ ndanusoro ịga nwayọọ nwayọọ (slow rhythm). Ndanusoro na-ewepụta echiche na mmetụtaobi dị n'abụ. Ndanusoro ịga ọsịịsọ ọsịisọ pụtara na echiche dị n'abụ dị mfe, na-ewepụtakwa mmetụtaobi ọṅụ. Ihe dịka n'ọtụtụ uri, mọọbụ akwamozu, ma ụdị uri ndị ọzọ dịka uri ọlụlụ nwaanyị, echichi, nwa, dgz. na-enwe ndanusoro na-aga ọsịisọ ọsịisọ, ka ha were kwe ọgbụgba ma na-enyekwa ndị mmadụ obi aṅụrị.

Ndanusoro ịga nwayọọ nwayọọ gosịrị na echiche dị n'abụ siri ike, ọ na-ewepụtakwa mmetụtaobi arịrị. Ihe dịka ndanusoro dị na mbem na ngụgọ na-aga nwayọọ nwayọọ n'ihi n'ọnwụ bụ ihe siri ike, na-ebute mmetụtaobi arịrị. Ọmụmaatụ *Mbem na Egwu Igbo,* ihuakwu. 51, abụ 109.

### ii Bịambịa nhatanha oge n'ahịrị na-esote onwe ha

N'abụ Igbo, a na-enwekarị nhatanha nkejiokwu (equal syllables) na-ahịrị na-esote onwe ha. Ebe e nwere nhatanha nkejiokwu, a ga-enwekwa nhatanha ụdaoge (equal beats). Mgbe nke a mere, ndanusoro ga-abụzi otu. Ya bụ, ebe ọ bụ na nkejiokwu ọbụla dị n'Igbo nwere nhatanha ụdaoge e ji ekwu ya, ọ pụtara na ahịrị niile nwere nhatanha nkejiokwu ga-enwekwa nhatanha ụdaoge. Ndanusoro ha ga-abụkwa otu. Ọmụmaatụ: *Mbem na Egwu Igbo*, ihuakwu. 49 abụ 102.

Amụ eji ka mma (7 syllables)
Amụ eji ka mma (7)
Amụ eji ka mma (7)

N’abụ a, ahịrị atọ a bụ otu ihe n’ihi na ha nwere nkejiokwu asaa, ya bụ, ha nwere nhatanha nkejiokwu, nhatanha ụdaoge na otu ụdị ndanusoro. Nke a pụtara na ha nwere bịambịa nhatanha oge n’ahịrị na-esote onwe ha.Anyị ga-ahụ ọmụmaatụ ọzọ n’abụ 8 na 11 e depụtara n’elu n’ahịrị ndịa:

**NkejiokwuỤdaogeNdanusoro**
Ọgụuri: Ọ nụrụ onu nnwa – ee, 9 9
1
Ọ nụrụ onu nnwa – ee, (abụ 8) 9 9
1

**NkejiokwuỤdaogeNdanusoro**
Okweuri: Nnwaakọna m nị. 7 7 1
Nnwaakọna m nị. (abụ 11) 7 7
1

Na nkebite ahịrị abụọ na-esota onwe ha si n’abụ 8, e nwerenhatanha nkejiokwu, 9, nke pụtara na ha nwere nhatanha ụdaoge, 9, nke butekwara ndanusoro ha ịbụ otu. N’otu aka ahụ,na nkebite ahịrị abụọ na-esota onwe ha si n’abụ 11, e nwerenhatanha nkejiokwu, 7, nke pụtara na ha nwere nhatanha ụdaoge, 7, nke butekwara ndanusoro ha ịbụ otu.

Ihe na-eme na nkejiokwu dị n’ahịrị abụ abụghị otu na a na-enwe otu nhatanha ụdaoge na otu ụdị ndanusoro bụ mgbe e nwere nribiri, nkwubiri, ntinyeokwu, kwunkwukwa na kwunkwugha. Ka anyị tulee ha n’otu n’otu.

**Nribiri**
Oge ụfọdụ, a na-enwe nribiri n’ahịrị abụ. Ka nke a si eme bụ n’ọgụuri nwere ike ịgụ otu ahịrị abụ, ndị okweuri amalite kwewe tupu oge ha eruo ka o were banyekwara nke ọgụuri na-agụpụta. Nke a na-akwalitekwa ndanusoro ịbụ otu. Ọmụmaatụ:
Lebra tọrọ tọrọ e dee (Nkejiokwu 9)
Onyeisi naị naị e dee (Nkejiokwu 11)

**Nkwubiri**
Nke a na-abụkarị n’ihe ọgụuri maọbụ okweuri kwesịrị ikwupụtacha, ma o kwubiri ya ekwubiri ka o wee kwalite ndanusoro ịbụ otu n’abụ. Ọmụmaatụ:
Ọ (bụ̱) kwa gị nwe ego a. (Nkejiokwu 8)
Ọ kwa gị nwe ego a. (Nkejiokwu 7)
*Mbem na Egwu Igbo,* ihuakwu. 78 abụ 5 & 6.

**Ntinyeokwu**

Nke a bụ ịdọtị ụfọdụ ụdaume iji mee ka ya na ụdaume dị n'ahịrịokwu ndị ọzọ bụrụ otu ụdaoge; ka ha wee nwee otu ndanusoro. Ọmụmaatụ:
*Mbem Akwamozu,* ihuakwu. 87 line 48
Jeruo dibịa nwaanyị Oru atụchaa nzu- uu,
Tụchaa nzu, a kwasịta afa ya – aa,
Lekata Chinyereude, tie – ee:
Ka ị bịara ilekwara elekwara – aa?
*Mbem na Egwu Igbo,* ihuakwu. 39 abụ 64; ihuakwu. 34 abụ 48, ihuakwu. 48 abụ 99, ihuakwu. 44 abụ 85; ihuakwu. 35 abụ 49, ihuakwu. 154 abụ 16.

**Kwunkwukwa (Repetition)**
Kwunkwukwa dị ụzọ abụọ. Ha bụ kwunkwukwa na-ana oge na kwunkwukwa a naghị ana oge.

Kwunkwukwa a naghị ewe oge bụ ebe ọgụuri gụrụ ihe ma gụkwa ya ọzọ maọbụ ozigbo na-enweghị mgbanwe maọbụ nchetụ ọbụla. Ọmụmaatụ:
*Abụ Igbo* ia 38 abụ 34 "Ọsụakwụ"
*Mbem na Egwu Igbo*, ihuakwu. 25 abụ 20:
O were nye nye,
O were nye nye,
O were nye nye,
*Mbem na Egwu Igbo,* ia. 29 abụ 35:
Akụrụ m ṅụrụ - ọ wụ ego,
Akụrụ m ṅụrụ - ọ wụ ego,
Akụrụ m ṅụrụ - ọ wụ ego,

N'aka nke ọzọ kwunkwukwa na-ana oge bụ ebe ọgụuri gụrụ uri ma chere ka ndị okweuri kwecha tupu ọ gụbakwa. Ọmụmaatụ kwunkwukwa nara oge dị n'akwụkwọ *Mbem na Egwu Igbo* ih.akw. 159 abụ 8; ih.akw. 155 abụ 1; ih.akw. 140 abụ 9.

**Kwunkwugha (Partial Repetition)**
Kwunkwugha, dịka kwunkwukwa, na-enye aka ịkwalite ndanusoro, isiokwu/echiche na mmetụtaobi dị n'abụ.

Kwunkwugha na-apụta ihe mgbe ọgụuri gụrụ uri ma gụkwa ya ọzọ n'udị na a ga-enwe ihe dịtụ iche na ha abụọ. Ọmụmaatụ: *Mbem na Egwu Igbo,* ih.akw. 34 abụ 49:
Nne gị gwa gị okwu nụrụ ihe,
Nna gị gwa gị okwu nụrụ ihe,
Nne gị gwa gị okwu nụrụ ihe,
*Mbem na Egwu Igbo,* ih.akw. 54 abụ 118; ih.akw. 62 abụ 3; ih.akw. 63 abụ 5; ih.akw. 65 abụ 11.

Mana mgbe ụfọdụ, nkejiokwu dị n'ahịrị na-esote onwe ha agaghị abụcha otu maọbụ adịcha nhatanha, mana site n'ime ka ụdaoge ha dị nhatanha, ndanusoro ha ga-abụkwa otu. Ihe na-eme ka ahirị abụ abụọ na-enweghị nkejiokwu ha nhatanha nwee otu ụdaoge bụ:

i. oge Nribiri: Nke a pụtara na ọgụụ maọbụ ndị okwee ga-ebido tupu ha eruo. Nke a ga-eme ka e nwee nhatanha oge n'agbanyeghị na ahịrị niile enweghị otu nkejiokwu.

ii. E nwekwara ike inwe ntinyeokwu n'udi ndọtị ụdaume (syllable lengthening) Ọkpọabụ na-etinye nkejiokwu ka ndanusoro wee daba, ọmụmaatụ,*Mbem na Egwu Igbo,* ih.akw. 49, nọmba. 103, ihu.akw. 34 nọmba. 49.

Ka anyi lee anya n'ọmụmaatụ nke a dị n'abụ a na-esonu:

| **Nkejiokwu** | **Ụdaoge** | | |
|---|---|---|---|
| Akwayị, ike na-eri Igbo, | rikwe èkèlè-ooo | 19 | 17 |
| Ọfara, ezenwaanyị, | rikwee èkèlè-ooo | 17 | 17 |
| Uduagụ na-eche ọha, | rikwee èkèlè-ooo | 18 | 17 |
| Onyeukwu ndị Ụkpọ, | rikwee èkèlè-ooo | 17 | 17 |

E lee anya na nkebite abụ a dị n'elu si n'akwụkwọ Ụzọchukwu, a ga-ahụ na nkejiokwu ahịrị niile dị na ya aghaghị nhatanha mana ha niile nwere otu udaoge.

**iii Bịambịa Echiche na-amajụ ibe ya**

Ihe na-eweta ndanusoro abụghị sọosọ nhatanha ụdaoge n'ahịrị na-esote onwe ha. Ọ bụkwa etu echiche ihe a na-ekwu si a majụ ibe ya.Nke pụtara na, ihe ọbụla e kwuru ga-enwerịrị ihe majụrụ ya n'ọtụtụ ahịrị na-esote onwe ha. N'uri, ụdị ndanusoro a na-apụta mgbe okweuri majụrụ/zara ihe ọgụuri gụrụ.Na mbem maọbu na ngụgọ, ọ bụ ụdị ndanusoro a na-adị mgbe e tuoro mmadụ aha, e were ihe e jiri mara onye ahụ majụọ (complete) aha e turu ya.

Ndanusoro na-agbado ụkwụ na bịambịa echiche na-amaju ibe yapụtara na a ga-enwe echiche na-amajụ ibe ya mana ọ dịghị mkpa na a ga-enwerịrị nhatanha oge tupu e nwee ya bụ ndanusoro. Iji maa atụ, e nwee ahịrị abụọ n'abụ, echiche dị n'ahịrị nke abụọ nwere ike imaju echiche dị n'ahịrị nke mbụ. Ọ bụrụ na i lee anya n'abụ (1) n'elu, e nwegasịrị echiche ndị na-amaju ibe ha. Hapụ "*Aya mbaye*" ndị okweuri na-ekwe mgbe niile, lekwasa anya n'okwu si ọgụuri n'ọnụ. Ihe ọgụuri na-ekwu nwechara echiche na-amaju ha n'okwu ya nke na-eso ihe o kwuburu. Ịma atụ, mgbe ọ na-enye nwagbọghọ na-ala di ndụmọdụ, ọ na-ewepụta echiche abụọ: ihe maọbụ ọrụ dịịrị nwagbọghọ ahụ na ọghọm ga-eso ya ma ọ bụrụ na ọ jụ ime ya bụ ihẹ/irụ ya bụ ọrụ:

….

A na-agwa gị gewe ntị, 1

*Aya mbaye*;
Ị ma na egeghị ntị na-apụta ụka 2
*Aya mbaye*;
O ru ụtụtụ sị zawa ụlọ, 3
*Aya mbaye*;
Maka na azaghị ụlo na-apụta ụka 4
*Aya mbaye*;
Ị zachaa ụlọ gị siwe nri, 5
*Aya mbaye*;
Maka esighị nri na-apụta ụka, 6
*Aya mbaye*;
I sichaa nri gị jewe ọlụ, 7
*Aya mbaye*;
Maka na ejeghị ọlụ na-apụta ụka, 8
….,
ị ga-ahụ na ọghọm dị na nwagbọghọ ahụ emeghị ihe a gwara ya bụ echiche na-amaju echiche dị n'ihe e buru ụzọ gwa ya n'usoro a:
**Echiche 1:** A na-agwa gị gewe ntị … (**Echiche ezuchabeghị oke**)
**Echiche 2:** Ị ma na egeghị ntị na-apụta ụka (**Echichemmaju)**
Ya bụ, echiche dị n'ahịrị 2 majuru echiche dị n'ahịrị 1; etu a ọ dị n'echiche 4 ịmaju echiche dị na 3, dịrị gawa n'usoro ahụ ruo na ngwụcha abụ ahụ. Echiche a nwere ike ịpụta n'ụdị ịda iwu na ntaramahụhụ so ya, mbọ maọbụ oru na ụgwọọrụ so ya, ihe mere na ihe kpatara o ji mee, dgz.
Gụọ *Abụ Igbo na Egwuregwu Ọdịnala Igbo,* ihuakwụkwọ 51, na*Mbem Akwamozu,* ihuakwụkwọ 26, 80.

Ọmụmaatụ ndị ọzọ dị n'*Abụ Akwamozu,* ih.akw. 19 abụ 6: ahịrị 1 na 2/ ahịrị 1 – 2 na 3; ahịrị 3 na 4/ahịrị 4 na 5, 5 na 6, 7; 8, na 9, dgz.
*Mbem Akwamozu,* ih.akw. 27, n'abụ a kpọrọ "Onwu Nne na Okwukwa Dịịrị Nwa",ahịrị 13 na 14, 15; 16 na 17, 18, dgz.
*Abụ Akwamozu*, ih.akw. 27 abụ 9, ahịrị 3 na 4; 5 na 6, 7, 8, 9; 10 na 11, 12, 13; 14 na 15; 16 na 17, 18; 19, 20 na 21, 22.

**1. 5. 3 Asụsụ**

Asụsụ ọbụabụ na-adị iche n'asụsụ nkịtị. Ọ naghị e ji asụsụ doro ewu na ọkụkọ anya ekwu ihe ọ na-ekwu. Ọ na-eme ka asụsụ o ji ekwu okwu na-emetụta anyị n'ụzọ pụrụ iche. Ihe ndị a na-eme ka asụsụ ọbụabụ pụọ iche n'asụsụ ǹkàtà nkịtị. Ya bụ, ọbụabụ na-eme ka asụsụ ya laa elu maọbụ buo isi site n'itinye ya atụmatụokwu (figures of speech), myiri (simile), mbụrụ (metaphor), mmemmadụ (personification), na nkwuma (paradox), egbeokwu (hyperbole), nkwuma dgz. E kewara atụmatụokwu ụzọ abụọ: enyookwu nke na-akwalite nkaokwu.

1. Enyookwu: Ndika, Mbụrụ, Mmemmadụ, Ahaọnọchi, Mpagharaọnọchi, Nkwuma, Egbeokwu, Uduokwu.

2. Atụmatụokwu na-akwalite nkaokwu, Igbuduokwu, Ajụjụnzaraonwe, Ụrọokwu.

Ọ bụ eziokwu na atụmatụokwu so na tuu bụ isi opi n'asụsụ abụ, mana ọ bughị naanị ya ka anyị ga-eleba anya. Ihe ọzọ e kwesịkwara ileba anya n'asụsụ abụ bụ nhọokwu (diction), olundị (dialect), okwumbite (borrowing words), okwummewe (coinages) na okwunchàra (archaism), ọbụabụ ji wepụta nka asụsụ n'abụ ya.

## 1. 6 Nchịkọta

Na yunit a, anyị mụrụ maka etu e si enyocha abụ ọdịnala. Anyị hụrụ ihe ndị a na-gbakwasa ụkwụ na ya mgbe a na-enyocha abụ ọdịnala ma ghọtakwa etu ndị ọkpọabụ ọdịnala si eme ka abụ ha pụọ iche maọbụkwanụ wepụta nkà mma dị n'abụ ha.

Mgbe a na-enyocha abụ Igbo ma nke ọdịnala ma nke ederede, anyị chọpụtara na yunit a na e nwere ihe abụọ a na-agbado ụkwụ enyocha ya nke bụ 'ndịna' na 'ọdịdị'. Anyị hụrụ na mgbe a na-ekwu maka ndịna abụ, ihe a chọrọ ịmata bụ echiche na mmetụtaobi dị n'abụ ahụ. N'aka nke ọzọ, mgbe a na-ekwu maka ọdịdị abụ, ihe a chọrọ ịmata bụ ndoko, ndanusoro na asụsụ abụ ahụ. Anyị mụkwara ihe ndịa niile pụtara nakwa etu ha niile si agbakọ aka eme ka abụ pụọ iche na ngalaba agụmagụ ọdịnala ndị ọzọ.

## 1.7 Nrụtụaka/Ngụmi

Uzochukwu, S. (2012). *Akankà na Nnyocha Agụmagụ*, 4th edition. Obosi: Pacific Publishers.

Uzochukwu, S. (1992). *Abụ Akwamozu*, Obosi: Pacific Publishers.

## 1.8 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a: Azịza Nnwale Onwe 1

Ihe bụ ndịna bụ ihe ndị a na-eleba anya bụ echiche (thought) na mmetụtaobi (emotion). Echiche dị n'abụ bụ ihe ọkpọabụ chọrọ iji

echiche ya gosị anyị. Ya bụ, ihe ọkpọabụ chọrọ ka ndị ogentị ghọta bụ ihe o bu n'uche were abụ ya bụ abụ.

## YUNIT 2 NNYOCHA AKỤKỌ/ỌDỊNỊGHA ỌDỊNALA

**Ndịna**

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọmkwem
2.4 Ndina Ifo
 2.4.1 Isiokwu
2.5 Ọdịdị
 2.5.1 Mbido na mmechi ifo
2.6 Nhaziakụkọ
 2.6.1 Àgwà
 2.6.2 Nkà Akọmakọ
 2.6.3 Asụsụ
2.7 Nchịkọta
2.8 Nrụtụaka/Ngụmi
2.9 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ



### 2.1 **Mkpọlite**

Na yunit 1 anyị lebara anya n'etu e si enyocha abụ ọnụ. Anyi kowara na mgbe a na-enyocha abu onu a na-agbado ukwu na ndina na odidi abu wee na-enyocha abu onu Igbo. Na yunit a, anyi ga-eleba anya n'etu e si enyocha ifo, nke anyị na-atụ anya na nwataakwụkwọ ga-agbaso nyochaa ụdị akụkọ ọdịnịgha ọdịnala ndị ọzọ n'ihi na e nwekebeghị ihe dị iche n'usoro e si enyocha.

## 2.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụa, ị ga-enweike:

- mụta etu e si enyocha ifo
- mara ihe ndi a na-agbado ụkwụ enyocha ifo
- ghọta etu ihe niile mebere ifo si agbakọta aka ewepụta nka mma dị n’ifo

## 2.3 Ndịna Kpọmkwem

## 2.4 Ndịna Ifo

### 2.4.1 Isiokwu (Themes)

E nwere ike ịnwe nkewa ndị a n’inyere anyị aka iwepụta isiokwu
1. Akụkọ ndị na-akụzi eziakparamagwa (moral stories)
2. Akụkọ mbe – na-akọ maka mbe (Tortoise stories)
3. Akụkọ Yamere (Why stories)

Akụkọ na-akuzi ezi akparamagwa:N’akụkọ gbasara eziakparamagwa, isiokwu a na-ahụkarị bụ esemokwu n’etiti ndị bụ nwunyedi, iji ọrụ eme nnwale, nwa agbọghọ ọma na ndị na-abịara ya di, mmadụ ịnata ụgwọ ọrụ yam aka ihe ọjọọ. Isiokwu nwere ike ịbụ ekworo, obiọjọọ.Akụkọeziakparamagwà nwere ike ịbụ iji gosị na àgwà nwere ịta ụta maka ihe ọjọọ ya maọbụ nata ọpịpịa.Isiokwu Nnwale: ihe, omume, ntachiobi mmadụ site n’ime ya ka ọ rụọ ọrụ siri ike omume. Ụzọ ihe abụọ nwere ike ịkpata nke a. Nke mbụ bụn’ihi obiọjọọ ebe nke abụọ bụmaka iji nata ụgwọọrụ

Mgbe agwa na-arụ ọrụ siri oke ike, a na-enwekarị enyemaka si n’aka ihe/onye ọbụla dịka ụmụmmụọ, ụmụanụ. Àgwà na-alọtakarị n’ọṅụka o mechara na mgbagwojuanya onye iro ya. N’ebe ndị na-achọ ịlụ ngwagbọghọ ọma nọ, e nwere ike ịsị ha weta ihe rara ahụ nke nwere ike ime ka ọ ga ogologo njem.

**AkụkọMbe**: Mbe bụ àgwà na-agbakarị elu n’akụkọ ifo Igbo. Ọ nọ ebe niile. Ọ na-emerikarị àgwà ndị ọzọ n’amamihe. A naghị emerikarị ya emeri. Ọ na-amasị ya maka omume aghụghọ ma anyị na-akatọ yamaka obiọjọọ ya. Ọ na-abụkarị odogwun’ifo Igbo. A na-ejikarị akụkọ ya egosị ime garagara. Mgbe ụfọdụ, a na-emerikwa/ghọgbukwa ya.

**Akụkọ Yamere:** Iji akọwa ụfọdụ ihe ọdịnachi, ọkacha n’ụwa anụ mọọbụ epumepu ihe ụfọdụ, ihe e ji eme maobụ kwụsị omenala ụfọdụ.

## 2.5 Ọdịdị

### 2.5.1 Mbido na Mmechi Ifo

Tupu ọ malite, otu ihe ọkọọ nwere ike ime bụ ịjụ maka akụkọ ifo ndị ha nụrụla maọbụ maara. Ọ na-ewetatụkwa usoro mbido akụkọ ifo nke a na-atụ anya na ụmuaka ga-azaghachi. Iji maa atụ,

| | |
|---|---|
| Ọkọọ: | Mbe dii |
| Ndịogentị: | Díì |
| Ọkọọ: | Chakpii |
| Ndịogentị: | Wọọọ |
| Ọkọọ: | Chakpii |
| Ndịogentị: | Haa |
| Ọkọọ: | Mbusu ufere<br>Busu m Busu m |
| Ndịogentị: | Chara |

**Usoro Mmechi:** E na-ekwu ihe dịka “akụkọ agwụla m n’ọnụ”, “Ọ gwụla”, “Ihe ifo a na-akuzi bụ …”, maọbụ e mechiekwa ya site n’ikwu ihe e kwuru na mbido ifo, dịka “Ifo (Mbe) dii.”

## 2.6 Nhaziakụkọ (Plot)

Ọkọọ iwebata kwunkwukwa na-eme ka akụkọ na-adị ogologo. Nke a bụ ụzọ e si ahụ na akọmakọ dị mfe. Otu agwa maọbụ àgwà dị iche iche ime otu emereme. Ịwebata abụ na-eme ka a mara mgbe emereme ọbụla gwụru meekwa ka e cheta usoro emereme si aga. E nwere ike iji abụ egosị mgbe emereme dị elu.

Nhaziakụkọ ifo na-enwekarị mmechi dabara n’ịme n’ezi omume: onye mere ezi ihena-enwe ụgwọ ọrụ, onye mere ihe ọjọọ anata ọpịpịa. Ihe na-akwụsịkarị akụkọ ifo bụ ihe akụkọ a na-akụzi bụ nke na-abụkarị ebunmnobi e ji akọ ifo ahụ.

### 2.6.1 Àgwà(Characterisation)

N’akụkọ ifo, a na-ahụkarị agwa adịghị adị etu mmadụ/anụ tosịrị ịdị, hụkwa ụwa adịghị ka ụwa mmadụ/anụ tosịrị ịdị (unusual characters and unusual world). A kọwaala ụwa ifo dịka ụwa mmem (eziakparamaagwa) na ihe apụghị ime eme (world of morals and romantic action). Ihe ọbụla pụrụ omume n’ụwa ifo. Ọtụtụ àgwà na-abụ anụmanụ ma ha bụ ụmụanụ pụrụ iche n’ihi na ha na-ezipụta echiche mmadụ na-akpakwa àgwà ka

mmadụ. Iji maa atụ Mbe nwere ike gụọ egwu, gbaa egwu, buru mmanya gaa ndị ọgọ ya, gaa nta gbuo anụ. Adimiche n'etiti agwa mmadụ na agwa abụghị agwa mmadụ adịghị mkpa n'ifo. Iji maa atụ, mmadụ nwere iek ịlụ osisi, anụọhịa nwere ike ịlụ mmadụ, nwagbọghọ ọma.

N'ụfọdụ ifo a na-anaghịakpọ aha àgwànke na-adabakwa na-akpọghị oge na ebe aha. Iji maa atụ, "E nwere otu nwoke" "Ha bụ ndị enyi ise". Nke mbụ bụeze, nke abụọ mejọrọ eze; ndị ọzọ nwere ike bụrụ di, nwunye na nwa.

Usoro izipụta àgwà na-adị mfe. Ịji maa atụ, mgbe a na-akọ akụkọ mbe, a na-ahụ agwara e ji mwere mbe. Naanị ịkpọ mbe aha ga-eme ka agwara dịka obi ọjọọ, aghụghọ ga-agbata anyị n'obi. Etu ọkọọ si eme ọnụ ya mọọbụ imi nwere ike ime ka a mata agwa ọ na-ekwu maka ya.

### 2.6.2 Nkà Akọmakọ (Narrative Technique)

Ifo bụ ekwurunọnụ. Ọkọọ na-akọ ka onye nọ na-ekiri emereme àgwà ndị e nwere. Ohere anaghị adịkebe itinye okwu nke aka ya. Ọkọọ nwere ike iwebata mgbanwo n'olu akụkọ ya. Ọ masị ọkọọ o nwere ike iji onye nke mbụ (ka esiri hu). Ụzọ akọmakọ ya dị ekelesu (direct) na-ebutekwa mmekọrịta. Ọkọọ na-akwa ndị ogentị akụkọ ihu na ihu, na-agbakwa mbọ iji okwu (asụsụ) nke ya akọrọ ndị ogentị akụkọ.Ọkọọ na-akọrọ akụkọ na-esonye n'akụkọ. Ha anaghị agba nkịtị.

### 2.6.3 Asụsụ (Language)

Asụsụ ifo na-adịkwa mfema na-agakwa werewere. N'oge ụfọdụ a na-enwe usoro nkenke ahịrịokwu ga n'akụkọ (sequence of short sentence may be given) Ọ na-enwekarị ụdịrị nkebiokwu na mmalite na mmechi akụkọ. Iji maa atụ, "mbe díí" Ọ bụrụ akụkọ na-akụzi eziakparamagwa, asụsụ ifo ga-ekwu ya n'ụzọ ọ ga-edo anya dịka, "Akụkọ a na-akụziri anyị na anyị etosighị izu ihe abụghị nke anyị".

Ya bụrụ akụkọ "Ya mere" Ọkọọ ga-akụzị ya n'ụzọ a: "Nke a bụ ihe kpatara …
N'ala Yoruba, ọkọọ kọchaa iji gosị n'akụkọ ya bụ eziokwu, o tinye mkpụrụaka ukwu ya n'ọnụ ya mee ụda.

**Nnwale Onwe 1**

| |
|---|
| Ifo Igbo na-adịkarị mfe. Tulee ihe kpatara nke a. |

## 2.7 Nchịkọta

Anyị mụrụ na yunit a etu e si enyocha ifo Igbo etu o si metụta ndịna na ọdịdị. Anyị chọpụtara na mgbe a na-ekwu maka ifo, ọ bụghị ihe nkịtị dịka ọtụtụ si eche, kama ọ dị ọtụtụ nkà na-agba elu na ya nke mere ndị mmadụ ji enwekarị mmasi n'ịge ya oge niile.

Ifo, dịka anyị maara, bụkwa nke e nwere ike inyocha dịka e si enyocha abụ na ejije. Anyị chọpụtara na mgbe a na-eme nnyocha ifo a na-eleba anya na ndina ya – isiokwu na-apụta ihe na ya;ọdịdị ya, dịka etu e si ebido nakwa emechi ifo. Ihe ndị ọzọ anyị chọpụtara bụkwa na a na-ele anya na nhaziakụkọ ifo, àgwà mebere ifo ahụ, nkà akọmakọ ọkọọ, nakwaasụsụ ifo. Ọ bụ ihe ndị a niile na-abịakọta ọnụ mebe nnyocha ifo zuru ezu.

## 2.8 Nrụtụaka/Ngụmi

Finnegan, Ruth (1970/2012) *Oral Literature in Africa*. UK: Open Book Publishers.

Uzochukwu, Sam (1985). *Mbem Akwamozu.*Onitsha: University Pub. Company

Uzochukwu, Sam (2006) *Abụ Akwamozu,*Uruowulu-Obosi: Pacific Publishers.

Uzochukwu, Sam (2001). *Traditional Funeral Poetry of the Igbo*. Lagos: University of Lagos Press.

Egudu, Romanus na Nwoga, Donatus *Poetic Heritage*

Ugonna, Nnabuenyi (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*. Ikeja: Longman Nigeria

Emenanjo, Nolue (1989). *Atumatu Agumagu na Atumatu Okwu*. Ikeja: Longman Nigeria Ltd.

Nwoga, Donatus I. (1981).“The Igbo Poet and Satire.” In Abalogu, U. C, Ashiwaju, G. & Amadi-Tshiwala (Eds.). Lagos: *Nigeria Magazine*

Ikwubuzo, Iwu (1990). “A Literary Analysis of the Igbo Riddles”. M.A. Dissertation, University of Lagos.

Ikwubuzo, Iwu (1998). "Myth in Written Igbo literature: A Critical Study". Ph.D. Thesis, University of Lagos.

I

kwubuzo, Iwu (2012) "Stylistic Features of Igbo Riddles". In Makokha, J.K.S., Obiero, O.J. & West-Pavlov, R. (Eds.) *Style in African Literature: Essays on Literary Stylistics and Narrative Styles*. Amsterdam: Rodopi.

*Poetic Heritage* p. 45

*Abụ Igbo*,ihuakwukwo 21 ("Ada Nwaigwe")

*Abụ Akwamozu* p. 45, No. 20

## 2.9 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a:

**Azịza Nnwale Onwe 1**

Ifo bụ akụkọ ọdịnala ndị Igbo na-akọrọ onwe ha iji mee ka a na-enwe obiańụrị tụmadị mgbe a na-enwe ezumike n'oge mgbede maọbụ e richaa nri abalị. Ọzọkwa bụ na o nweghị onye nwe ya etu ọbụla ọkọọ si kọọ ya ka o si dị. ma nke o chetara ma nke o chetaghị enweghị ihe o mebiri. O nwekwara ike tinye ya nnu na ose. Iwu ejighị onye ahụ. O mere ya ọ dị mfe na-atọkwa ụtọ na ntị.

## YUNIT 3 NNYOCHA EJIJE/EGWUREGWU ỌDỊNALA

**Ndịna**

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpomkwem
 3.3.1 Ndịna Ejije
3.4 Isiokwu
3.5 Ọdịdị
 3.5.1 Ndokọ Ejije
 3.5.2 Ndanusoro
 3.5.3 Àgwà na Ihenkiri ndị ọzọ n’Ejije
 3.5.4 Asụsụ Ejije
3.6 Nchịkọta
3.7 Nrụtụaka/Ngụmi
3.8 Ihe ndị nwere ike ịbụ azịza nke ajụjụ onwe ndị ahụ

### 3.1 Mkpọlite

Na yunit2, anyi lebara anya n’etu e si enyocha ifo, nke anyị na-atụ anya na nwataakwụkwọ ga-agbaso na nyochaa ụdị akụkọ ọdịnịgha ọdịnala ndị ọzọ n’ihi na e nwekebeghị ihe dị iche n’usoro e si enyocha ifo na ha. Na yunit 3 a, nnyocha ejije ọdịnala bụ ihe ọzọ anyị ga-elenye anya, kọwaa ihe ụfọdụ dị mkpa nwataakwụkwọ kwesịrị ibu n’uche mgbe ọ na-atụle ejije ọdịnala. Mana ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na usoro a na-agbaso enyocha otu ụdị agụmagụ na ibe ya anaghị adịkebe iche, dịka eserese a gosiri:

**Nnyocha Ejije**

- **Ọ̀dị̀nàya**
  - **Echiche**
  - **Asụsụ**
  - **Mmetụtaobi**
- **Ọ̀dị̀dị̀**
  - **Ndokọ**
  - **Ndanusoro**

Ndị Igbo nwere ejije ọdịnala (ọnụ) dị icheiche n’obodo dị icheiche n’ala Igbo. Ejije ọdịnala nke anyị ga-eji enye ọmụmaatụebe a bụ mmọnwụ mana anyị ga-agbado ụkwụ n’ejije mmọnwụ n’obodo Ebenatọ̄-Ѐkwè dị n’Ọchịchị Imeobodo Isu, Imo Steeti.

## 3.2 Mbunuche

Na ngwụcha yunit ihe ọmụmụ a, ị ga-enweike:

- mụta etu e si enyocha ejije ọdịnala
- mara ihe ndị a na-eleba anya nannyocha ejije ọdịnala – ndịna na odịdị ya.
- gbado ụkwụ n'ihe a kuziri gbasara nnyocha ejije ọmụmaatụ e nyere ebe a nyochaa ụdị ejije ọdịnala e nwere n'obodo ya.

## 3.3 Ndịna Kpọmkwem

### 3.3.1 Ndịna Ejije

Dịka eserese di n'elu si gosị, ihe a na-eleba anya na ndịna bụ echiche na mmetụtaobi. Ihe ga-akacha eweputa echiche na mmetutaobi anyi bu n'uche ebe a bụabụ mmọnwụ. Echiche dị n'abụ bụ ihe ọkpọabụ chọro iji abụ ya egosị, ya bụ, ihe ọ chọro ka ndị ogentị/oleanya ghọta. Echiche dị n'abụ ga-arụtụrịrị aka n'ihe gbasara ụwa, ahụmihe, ọnwụ na ndụ, onye okike na ihe o kere, agha na udo. Echiche dị n'abụ na-akwalite mmetụtaobi. Ọ bụ ụdị echiche abụ wepụtara ka e si amata ụdị mmetụtaobi ọ ga-akwalite. Mmetụtaobi a na-enwe n'abụ dị iche iche nke olenaole n'ime ha bụ nke egwuọtụtụ, mmeruweobi, ọṅụ, iwe, àrị̀rị̀, ịtụnanya, na akpọmasị.

Echiche na mmetụtaobi dị iche iche na-agba elu n'abụ mmọnwụ n'Ebenatọ̄ Ekwè. A na-akpọ abụ mmọnwụ, ndị ogentị na-enwe ọṅụ, egwuọtụtụ ma ọ bụ ịtụnanya. Ma a ga-enwe ọṅụ, mmeruweobi ma ọ bụ egwuọtutụ ga-esite n'ụdị echiche ọkpọabụ wepụtara.

Dịka anyị siri rụtụ aka n'eserese anyị nyere na mgbago, ihe izizi anyị ga-eleba anya n'inyocha abụ mmọnwụ bụ ndịna. Ndị̀nà, dịka anyị kwurula, metụtara echiche na mmetụtaobi dị n'abụ. Echiche bụ ihe abụ na-ekwu maka ya, ebe mmetụtaobi bụ etu ya bụ abụ siri metụta anyị n'obi.
Ugbua ka m were abụ mmọnwụ a na-esonu nye ọmụmaatụ:

**Ọ̀dị̀nàlà Adị Ala Ala**

| | |
|---|---|
| Ọgụ uri: | Ọdịnala adị ala ala, |
| Ndị okwee: | Egwu ọdịnala; |
| Ọg: | Ọdịnala adị ala ala, |
| Okw: | Egwu ọdịnala; |
| Ọg: | Egwu a ka e ji mara mụ-ụ, |

Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Egwu a ka m ji kụ isi nkwa,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Egwu a ka e jiri mara Ekwe,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Egwu a ka e jiri mara Igbo,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Egwu a na o shile Igbo gaa Oru,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Egwu a na o shile Oru lo Igbo,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Ọdịnala adị ala ala,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Ọdịnala adị ala ala,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Egwu a ka e jiri mara anyị,
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Ị ma na egwu ọdịnala o kweghi ọlịla?
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọg: Ị ma na egwu ọdịnala o kweghi ọnwụnwụ?
Okw: Egwu ọdịnala;
Ọgụ: Ọdịnala adị ala ala,
Okw: Egwu ọdịnala;

N'abụ a, "Ọdịnala adị ala ala", echiche ọkpọabụ na-achọ igosịpụta bụ na mmọnwụ bụ egwu ọdịnala. Ndị Igbo bụ ndị e jiri ihe ọdịnala mara. Ọkpọabụ na-achọ ime ka anyị ghọta na mmọnwụ abụghị egwu naanị ndị Ekwe na-agba kama ọ bụkwa egwu zuru Oru na Igbo ọnụ. Ọ bụ nke a kpatara o jiri sị anyị na egwu a ka e jiri mara Ekwe; egwu a ka e jiri mara Igbo; naya bụ egwu siri Igbo gaa Oru, sikwa Oru lọghachi Igbo. Egwu ọdịnala bụ ihe adịghị ala ala; na-adịghị anwụkwa anwụ. Ọ bụ nwana tote o tokwuru.

Mmetụtaobi anyị siri n'egwu a nweta bụ nke aṅụrị. Ọ bụ ihe aṅụrị nye ndị òtù mmọnwụ na ndị oleanya ịhụ na obodo Ebenatọ-Èkwè sokwa bụrụ obodo a maara amara n'ihe gbasara egwu ọdịnala. Ọ na-abụkwa ihe aṅụrị nye ndị òtù mmọnwụ na ndị oleanya mgbe ha na-aghọta na ha nwere ihe ọdịnala e jiri mara ha, tụmadị mgbe ha na-achọpụta na ọ bụkwa egwu a maara amara ma n'Oru ma n'Igbo.

## 3.4 Isiokwu

E wepụ njije a na-eme na ya na ihenkiri ọ na-enye ndị ọleanya, ejije ọdịnala, dịka ụdị agụmagụ ọdịnala ndị ọzọ, na-enwe isiokwu. Ihe a na-eme na ya na-ewepụta isiokwu dị icheiche, ọkachasị n'abụ na-agba elu na ya, dịka anyị hụrụ n'ọmụmaatụ anyị nyere n'elu.Isiokwu ejije

mmọnwụ nwere ike ịdaba n'otito, nkọcha maọbụ ndụmọdụ. N'abụ mmọnwụ a kpọrọ "Ọsụkwụ", abu 34, n'*Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo,* a kọchara onye zuru ohi akpụ. N'abụ nkọcha (ìkpe̍) a, a gụrụ:

Ọsụkwụ tụgharịba,
Mmarịgo tụgharịba,
Anyị n'onwe anyị tụgharịba,
Anyị anaghị eji ohi akpụ eti mmọnwụ.

Akatakpọ si ka e tibe,
Ere̍ere si ka e tibe,
Mụ onwe m sị ka e tibe,
Anyị anaghị eji ohi akpụ eti mmọnwụ.

Eeē ka e tiwe,
Eeē ka e tiwe,
Eeē ka e tiwe,
O kworo jiakpụ na mgbago.

Akatakpọ chegharịa,
Ere̍ere chegharịa,
Onye ụlọelu chegharịa,
Anyị anaghị ezu jiakpụ na mgbago.

Ndị mmarịgo – ndị ọgụabụ mmọnwụ – gụrụ abụ ìkpe̍ a iji kọchaa otu onye òtù ha zuru ohi akpụ̄. Ahịrị, "Anyị anaghị eji ohi akpụ eti mmọnwụ", na-egosi na onye a na-akọcha n'abụa bụ otu onye n'ime ndị na-eti mmọnwụ. Ha achọghị ka onye na-ezu ohi so ha na-eti mmọnwụ."O kworo jiakpụ na mgbago" na-egosi na onye ohi ahụ bụ̀rụ̀ ya bụ akpụ n'ebe dị elu, n'ugwū. Etu e si nwee abụ nkọcha ka e si nwekwa nke otito na ndụmọdụ n'ejije mmọnwụ.

## 3.5 Ọdịdị

A bịa n'ọdịdị abụ, dịka eserese anyị dị na mgbago sikwara gosị, ihe ndị a na-eleba anya bụ ndokọ, ndanusoro na asụsụ abụ nwere.

### 3.5.1 Ndokọ Ejije

Ejije ọdịnala na-enwe akụkọ mana nhaziakụkọ (plot) ya anaghị agbaso usoro ejije nke ndị ọcha. Nhaziakụkọ bụ idokọ maọbụ ịhazi emereme dị n'akụkọ n'usoro n'usoro, nwere ihe jikọrọ ha ọnụ. Ihe mee, e nwee ihe katara ya, nke ga-edubakwa n'emereme ọzo nke ga-enwekwa m̀kpa̍ta̍ra̍, dịrị gawa. Na nhaziakụkọ ejije ndị ọcha, dịka n'ejije ọdachi, a na-atụ anya na agwa ga-eṅomi akụkọ na-esite na mbido banye n'etiti ruo na ngwụcha. N'ejije ọnụ Igbo, nhaziakụkọ maọbụ emereme anaghị enwe ndịnotu – anaghịenwe ihe jikọrọ ha ọnụ kama ha na-adị ewetaetii, ya bụ,

emereme dị iche iche e kpokọrọ ọnụ nke na-agbadokarị ụkwụ na nkọmịrịkọ obodo. N'ejije mmọnwụ, iji maa atụ, akụkọ ya na-agbado ụkwụ na nkọmịrịkọ alammụọ na mmetụta alammụọ a n'ebe ndụ mmadụ dị. Nke a putara na ejije Igbo nwere akụkọ ozuruigboọnụ na-ezipụtansirihụụwa ndị Igbo ebe e nwere mmekọrịta n'etiti ụmụmmụọ na ụmụmmadụ.

Ihe kpatara ejije ọdịnala ejighị enwe nhaziakụkọ ndịnotu bụ makana ọ bụ ihe ọhaobodo nwè. Ejije, dịka Echeruo (1981) siri kwu, bụ ihe na-ewe njikọta aka ọtụtụ mmadụ. Ọ na-achọ, karịa ka a na-enwe na ǹkà ọzọ ọ bụla, ọgbakọ mmadụ n'oge ngosị ya niile. Ọtụtụ mgbe n'ikwu eziokwu, ọ na-achọ nsogwanye ndị mmadụ n'emereme uri ọgụgụ. Ossie Enekwe (1981) kwenyere na nke a mgbe o kwuru na ejije ọdịnala Afrịka bụ ụdị na-ewepụta mmemme na nsogwanye ndị mmadụ, ma tinyekwa na ejije ọdịnala Afrịka zuru ezu n'ihi na ọ chịkọtara ọtụtụ ụdịrị ǹkà ọnụ dịka: egwu, abụ, egwu ọgbụgba, ngosị, nṅomi, ewerewo, eserese, egwu okwukwe, mkparịtaụka d.g.z., nke pụtara na ọ bụghị sọọsọ ekwumekwu na-agba elu dịka ọ dị na nke ndịọcha.

N'okwu nke ya gbasara ejije ọdịnala Afrịka, J.A. Ramsaran (1970) sịrị na e nweghị ka a ghara inwe mmekọrịa n'etiti ndị oleanya na ndi omeka. Onye ọ bụla na-etinye aka n'ịkwalite ọganihu ya bụ ejije site n'isonye na ngagharị,ịma mbem, ịgụ egwu, iṅomi maọbụ ịzaghachi n'abụ a na-agụ n'oge o kwesịrị.

A bịa na ndokọ abụ, bụ ihe e si na ya ewepụta ihe a chọrọ ịgwa ndịnkiri ejije, ihe a na-eleba anya bụ etu ọkpọabụ siri chịkọta abụ ya ọnụ. Ndokọ abụ ọdịnala na-adịkarị ụzọ abụọ: nke ọzịza ozugbo na nke ọzịza nchetụ ma ọ bụ ọzịza naara oge.

A bịa n'ọzịza ozugbo, ndị okwee na-ekwe ihe ọgụụ gụrụ na-enweghị nchetụ ọ bụla. Mgbe ụfọdụ, ndị okwee ga-ekwe ihe ọgụụ gụrụ na-enweghị mgbanwo. Nke a ka a na-akpọ àgụèkwe. Mgbe ụfọdụ kwa, ndị okwee na-ekwe ihe dị iche na nke ọgụụ. nke a ka a na-akpọ àgụèkweghariị.

A bịa n'ọzịza nchetụ maọbụ nke naara oge, ndị okwee na-echetụ ka ọgụụ gụchaa ọtụtụ ahịrị tupu ha kwee. Mgbe ụfọdụ, ndị okwee ga-echetụ ka ọgụụ gụchaa ọtụtụ ahịrị ha nwa ekwekwaa ihe ọgụụ gụrụ na-enweghị mgbanwo ọ bụla. Mgbe ụfọdụ kwa, ndị okwee nwere ike ịgbanwo ihe ọgụụ gụrụ.

Ụdị ndokọ a anyị kwuru dị n'abụ mmọnwụ n'Ebenatō̩-Èkwè mana nke na-adịkari bụ nke mbụ (ọzịza ozugbo) dịka anyị ga-ahụ n'abụ ndị e jibu nye ọmụmaatụ na mgbago n'edemede a.

### 3.5.2 Ndanusoro

A bịa n'ihe gbasara ndanusoro abụ mmọnwụ, ọ bụ otu ụzọ ahụ a kuziri na yunit1, n'okpuru nnyocha ndanusoro abụ, ka ị ga-agbaso.

### 3.5.3 Àgwà na Ihenkiri ndị ọzọ n'Ejije

**Àgwà Mmọnwụ na Nzipụta Ya**

Agwa bụ ihe na-agbakarịcha elu n'ejije mmọnwụ. Ọ dabara adaba ịsị na ihe niile na-eme n'ejije hidoro isi n'agwa n'ihi na ọ bụ ihe agwa na-eme bụ na e nwere ejije. Ugonna (1984:69) kọwara na e nwere ike inweru agwa asatọ n'otu èkwùrù mana n'ihi oke ọnụ ịrụpụta ha dị, ọtụtụ ekwuru na-ewedata ha n'anọ nke dabara n'ogo anọ ndị a: ezemmụọ, dimkpammụọ, akakpọmmụọ na agbọghọmmụọ.

Ejije mmọnwu n'obodo Ebenatọ̄-Èkwè, jupụtara n'ihenkiri. Ihenkiri a dịka Ugonna (1984) siri kọwa, metụtara ọtụtụ ihe a na-ahụ anya n'ime obom, ya na nkamma ha na-ezipụtara ndịnkiri.

Ihenkiri kachara gbaa elu n'ejije mmọnwụ bụ ndị omeka, ya bụ, mmọnwụ n'onwe ha(agwa). Ọ bụ ikiri ka mmọnwụ si agba egwu ka ndịnkiri na-eji agbakọta n'ime obom mgbe a na-agba mmọnwụ. Ihe a na-ekiri bụ etu e siri chọọ yamma; ụdị ụkwụ egwu ọ na-ewepụta mgbe ọ na-agba egwu, na ụdị mmegharịahụ dị iche iche ọ na-egosị iji mee ndịnkiri obiụtọ.

**Àgwà AnọE Nwere Na Mmọnwụ Ebenatọ̄-Èkwè**

E nwere ụdịrị mmọnwụ anọ n'ejije mmọnwụ obodo a. Ha bụ Ùdezùrùìgbò, Ìgbòjìòkwu, Agụezè na Èjìèkwunọọnụ̄. Mana ihe anyị ga-akpọ ha bụ agwa n'ihi na ha na-apụta n'otu ejije mmọnwụ, n'otu èkwùrù.

Ùdezùrùìgbò:

Ihe e ji mara àgwà a, ya bụ, njirimara/agwara ya, pụtara ìhè n'aha ọ na-aza. Aha abụUdezuruigbo sitere n'"ude m zuru Igbo niile", ya bụ, onye a maara amara n'ala Igbo niile. Ọ bụ mmọnwụ chezuru echizu n'ọzọ̄. A na-asọpụrụ ya asọpụrụ n'ihi na ọ bụ ya karịchara ndị ozọ n'ọkwa. A bata n'ime obom, ọ bụ Udezuruigbo na-arịkwasị ebe kacha elu n'ọdà. Ọ dịghị mmọnwụ ọzọ na-arịkarị ya. Mmọnwụ ndị ọzọ na-eso ya n'azụ ma ọ na-apụta n'obom.

Udezuruigbo *bụ* mmọnwụ mara mma ile anya. E jiri abụba ugo na ọzaebule chọọ isi yamma. Ihe e jiri dozie obi ya bụ esuru na akwa jọọjị̀

ebe ukwu` ya bụ ashịshangwọ. Ụkwụ ya na-enwe akwa ọcha. Mgbe ụfọdụ, ọ na-ebu enyo n'isi. Ngosị ya na-adị èbùbè, dị ịtụnanya.Otu ihe so akpali mmụọ ndị mmadụ ịbịa ekiri Udezuruigbo bụ ànwàǹsị̀ na ihe ịtụnanya dị iche iche ọ na-eme n'ime ọgbọ. Ọtụtụ mgbe ka Udezuruigbo na-agbakata egwu, ọ daa ala, fuo, ndịnkiri agaghị ahụkwa ya. N'oge adịghị anya, e nwere ike ịhụ ya ka o si ebe ọzọ na-apụta. Nke a bụ nkiri na-atụ ndịnkiri egwu karịchaa.

Ìgbòjìòkwu*:*
Nke a bụ nwa Udezuruigbo. Dịka aha ya siri dị, ọ bụ ndi Igbo ka ọ dị n'aka ikwu etuihe ha ga-adị. Site n'omume ya, ogo ya na ụdi ọrụ ọ na-arụ, ọ bụya ka anyị ga-akpọ akakpọ mmọnwụ (akakpọmmụọ). Ọrụ ya nke kachara gba elu bụ ịchụ ọgbọ n'ime obom. Ọ dị agharata, na-emenyekwara ndi mmadu egwù. Ọ na-abụ mgbe ọ bụla ọ pụtara n'obom, ụjọ na egwu ejide ndị ọleanya, ha achịriume ha n'aka n'ihi achụmọsọ ya. Mkpagharị na mmegharịahụ ya na-ekowe ndi mmadu obi n'elu. Tupu Udezuruigbo ma ọ bụ mmọnwụ ndi ọzọ esi n'ekwuru pụta n'obom, ọ na-abụ ọrụ Igbojiokwu ịchụ ọgbọ mee ka òhèrè dị n'ime ọgbọ. E jighị ihe dara oke ọnụ ejike ya dịka a na-eji ejike Udezuruigbo.Oke agharata na achụmọsọ Igbojiokwu bụ ihekiri ọzọ na-eme ka ndị mmadụ na-enwe mmasị ịga ekiri egwu mmọnwụ. Igbojiokwu, dịka anyị kwuru n'elu, bụ nwa Udezuruigbo. Ọ bụ mmọnwụ dị agharata, nke ọrụ ha na-abụkarị ịchụrụ Udezurigbo ọgbọ, na iyinyerendịnkiri egwù. Ọ bụ eziokwu na akparamagwa ya na-ekowe ndịnkiri obi n'elu, mee ka ha chịrị ume n'aka mana ọ na-abụ nnukwu ihenkiri nye ha.

Agụezè*:*
Agụ pụtara onye na-akpa ike. Agụeze bụ agu onye ezè. O chiela ọzọ̄ mana o chizubeghị dịka Udezuruigbo. Ngosị ya n'ime obom na-adị eme ndị mmadu obiụtọ ma na-atụkwa egwu mgbe ụfọdụ. Ihe e jiri mara ya bụ ịgba egwu ntụgharị maọbụ nfegharị na ịkụ isi n'ala. A na-akpọkwa ya "òjì àzụ àga" ma ọ bụ "mmà ekwū ihu naabọ" n'ihi na ọ na-ara ahụ ịchọpụta ebe bụ ihu ya na azụ ya site n'ụdị ọ na-esi eje ije

O nwere ike iji isi agba egwu, ya bụ, o nwere ike ịkpọdo isi n'ala chịlie ụkwụ elu mgbe ọ na-agba egwu. O nwekwara ike iji azụ agba ọsọ. Ngosị ya na-abụ nnukwu ihenkiri nye ndịnkiri. Mgbe ọ bụla a na-agba egwu, Agụeze egosibeghị nke o jiri bụrụ ya, ọ na-adị ndịnkiri ka a ga-asị na ha amalitebeghị kiriwe ihe ha kworo maka ya gbakọọ. Ha nwere ike hụchaa mmọnwụ ndị ọzọ na ngosị ha na-eme mana ha agaghị enwecha afọōjuju ruo mgbe Agụeze malitere ngosị nke ya. Nke a pụtara na ihe ọtụtụ mmadụ na-eji abịa n'amaukwu mmọnwụ bụ iji wee hụ ya. Ụdị e siri chọọ mmọnwụ ndị a niile mma bụkwa ihenkiri.

Èjìèkwunọọnụ̄*:*

Nke a pụtara na ọ bụghị sọ n'ọnụ ka a na-ekwu, ọ bụ a na-ekwu, a na-eme eme.

O chibeghị ọzọ̄ ọ bụla mana ọ na-emetụ aghịrịgha dịka Igbojiokwu. Njike ya mgbe ụfọdụ na-atọ ọchị n'ihi na dịka onye na-echibeghị ọzọ̄, a na-ewe ya na o nwebeghị ihe e ji achọ mma.

**Ihenkiri Ndị Ọzọ n'Ejije Mmọnwụ**

Omume ndị na-edu mmọnwụ, dịka nke onye Otiịgba, na-abụkwa ihenkiri nye ndị mmadụ. Otiịgba bụ mmadụ siri ike na-emekwa ihe ike. Ọ bụ ya na-agbagharị n'obodo eme ka ndị mmadụ mara na a ga-agba mmọnwụ. Tupu mmọnwụ abata n'ọgbọ, Otiịgba na-eji ọsọ agbabata n'ime ọgbọ. Ọ bata, ọ na-amagharị, awụgharị, emegharị ahụ iji gosị ndịnkiri ka ike dị ya n'ahụ ha. Mgbe ụfọdụ, ọ na-eme ka obi ya buo nnukwu ibu nke ga-eme ka a na-ahụ akwarà dị ya n'obi. O nwekwara ike ime ka àpàtàụkwụ̄ ya na-ama jìjìjì. Ihe ndị a niile ọ na-eme bụ iji mee ka ndịnkiri too ya na ọ bụ onye akpamike.

Ihenkiri ọzọ a na-enwe bụ nke ndị ọkụ egwu na ndị ọgụ egwu na-eme. Ndị a bụ ndị na-eji ọnụ na aka ha eme ǹkà. Ọ bụ ha na-ebu ụzọ apụta n'ọgbọ egwu tupu ndị omeka apụta. Ozugbo ha pụtara n'ọgbọ, ha na-amalite ịgụ na ịkụ egwu. Nke a na-eme ka ndịnkiri na-abata n'ọgbọ na-agba ha okirikiri, na-ekiri ǹkà ha ji ọnụ na aka ha eme. Egwu ha na mmegharịahụ ha na-akwalite mmasị ndịnkiri ịnọrọ kiri ndị omeka n'onwe ha.

Anyị agaghị asị na ihenkiri a na-enwe n'ejije mmọnwụ bụ sọọsọ ndị anyị kpọro aha n'elu. Ndịnkiri n'onwe ha bụkwa ihenkiri. Nke a bụ eziokwu ma anyị cheta na mgbe ụfọdụ, e nwere ike ịnụ ka ndị na-akwado ịga ekiri mmọnwụ na-asị: "ka anyị ga leele ọ̀haèshì". "Ọ̀haèshì" pụtara ọhanaeze ma ọ bụ ndị mmadụ. Ya bụ, mbunuche ndị mmadụ abụghị ịga n'obom ekiri nnanị mmọnwụ, kama ọ bụkwa ịga ekiri ndị mmadụ - ụdị uwe ha yi; ụdị ụgbọala ha bu; ndị mmadụ si ebe dị iche iche bịa na akparamagwa dị iche icheha ga-egosị. Ọ bụ ihe na-eme eme na mgbe ụfọdụ i lee ndị nọ n'ime obom ánya, ị hụ ndị anya ha anọghị na n'egwu a na-agba. Anya ha ga-adị ebe ọzọ otu ihe ma ọ bụ ihe ọzọ na-eme.

Obom mmọnwụ n'onwe ya bụkwa ihenkiri nye ndịnkiri. Obom mmọnwụ bụ ebe a na-achọkarị mma n'oge ọ bụla a na-agba mmọnwụ. Ndịnkiri na-ekirikwa ihe ndị e jiri chọọ ya mma na ọtụtụ ihe a na-ahụ n'ime ya. Iji maa atụ, amaukwu mmọnwụ nwere ihe a na-akpọ ùkpò, ebe mmọnwụ na-arịgoro. O nwere ìgbùdù bụ ihe a kpụrụ akpụ yiri mmadụ. Ihe ndị a na-abụ ihenkiri nye ndị mmadụ, tụmadị ndị ọbịa.

Ihenkiri kachara gbaa elu, dịka anyị kwuru na mgbago, bụ mmọnwụ n'onwe ya. Mmọnwụ bụ mmụọ. Ndị Ebenatọ-Ekwe, tinyere ndị Igbo ndị ọzọ na-agba mmọnwụ, kwenyere na ọ bụ mmụọ nnanna ha nwụrụ anwụ na-apụta ka ha na ndi dị ndụ nwee mmekọrịta. Ihenkiri niile ọ na-eme na-egosịpụta ejirimara mmụọ. Ọ bụ site n'ejije mmọnwụ ka mmadụ si egosịpụta ụ̀mà̀rà̀ o chere na mmụọ nwere. O nwere ike iji isi aga ije; were imi ekwu okwu; were otu ụkwụ aga ije; were azụ aga ije; a dịghị ahụ āhụ ya anya. Ihe ndị a niile abụghị ihe e ṅomitara n'ebe ọzọ ọ bụla kama ọ bụ igosị ka ejije mmọnwụ siri bụru ọrụ ǹkà, na ka ngosị ya siri jupụta na nkamma nke na-eme ka ndịnkiri nwee aṅụrị na afọōjuju n'ihe ha na-ekiri.

### 3.5.4 Asụsụ Ejije

Dịka Ugonna (1982) siri kwu, ndị Igbo bụ ndị a maara, site kemgbe gboo, n'iwepụta abụ n'oge ngosị dị iche iche dịka ofufe, emume ọhanaeze, nakwa ejije (ọdịnala).

N'ejije mmọnwụ, otu ihe dịkarịsịrị mkpa bụ asụsụ na abụ ya. Dịka anyị rụtụburu aka na mbu na mgbago,*Longman Dictionary of Contemporary English* kọwara abụ dịka nkenke ederede edokọrọ n'usoro ahịrị na ụda nke ji asụsụ enyouche ewepụta mmetụtaobi di omimi, echiche ma ọ bụ ahụmihe mmadụ. *Webster's Third New International Dictionary* na nkọwa nke ya, hụkwara abụ dịka ederede na-egosipụta enyouche nke ahụmihe n'asụsụ a họọrọ, dokọọ ka o wepụta mmetụtaobi e bu n'uche site na mpụtara, ụda na ndanusoro ya bụ abụ.

Nkọwa ndị e nyere n'elu na-ekwu maka sọọsọ abụ ederede. Mana dịka anyị maara, abụ ọdịnala bụ ekwurunọọnụ; e deghị ya ede. Ọ bụ nke a kpatara Ugonna (1982) jiri kwenye na ihe anyị ga-akpọ abụ abụghị naanị ihe e deputara edepụta kama ọ bụ kwa okwu e dokọrọ kwupụta ya n'ọnụ nkịtị. Anyị kwetara na ihe Ugonna kwuru bụ eziokwu n'ihi na ọtụtụ abụ Igbo, tinyere abụ mmọnwụ bụcha ekwurunọọnụ. A na-ekwe ha ekwe, agụ ha agụ ma ọ bụ ekwu ha ekwu. Na nchịkọta okwu ya, ọ (Ugonna) kọwara abụ dịka okwu dị n'ahịrị n'ahịrị ma ọ bụ n'ọgbara nwere ndanusoro a na-ekwe ekwe, agụ agụ ma ọ bụ ekwu ekwu.

Babalola (1974) hụrụ abụ dịka ihe na-enwe ndanusoro, echiche na mmetụtaobi dị elu nke e jiri asụsụ miri emi ma ọ bụ asụsụ atụmatụokwu wepụta. Ihe ọ na-akọwa, dịka anyị siri ghọta, bụ na asụsụ abụ agaghị abụ asụsụ nkịtị doro ewu na ọkụkọ anya, kama ọ ga-abụ nke atụmatụokwu na ụdị okwu ya ga-adị elu.

Anyị gbado ụkwụ na nkọwa ndị e nyere gbasara abụ na n'ihe ndị ọkammụta ndị anyị kpọrọ aha kwuru, anyị ga-asị na abụ ga-ewepụta ndanusoro, kwalite echiche na mmetụtaobi, bụrụkwa ihe e jiri asusụ miri

emi wepụta. Asụsụ miri emi ebe a pụtara na asụsụ ọkpọabụ agaghị abụ asụsụ nkịtị doro ewu na ọkụkọ anya, kama ọ ga-abụ nke o mejughara ka o metụta anyị n'ụzọ pụrụ iche. Ọ ga-abụ asusụ ilu, akpaalaokwu, uduokwu, ụdaokwu, igbuduokwu d.g.z. ga-agba elu na ya.

N'asụsụ abụ mmọnwụ, ihe a na-eleba anya bụ atụmatụokwu, nhọokwu - ịhụ ka ọkpọabụ siri chọọ asụsụ yamma site n'iji okwummewe, okwumbite na olundị, nakwa etu o siri jigharị okwu ka nkamma dị n'asụsụ pụta. N'abụ a kpọrọ "Ọsụkwụ", anyị depụtara n'elu, iji maa atụ, asụsụ ya dị n'ụdịntụfeokwu (inuendo) nke bụ mkpọfere na-egosi nkatọ mana a akpọghị onye a na-ekwu maka ya aha. A na-arụtụ aka n'ihe n'ekwughị ihe ahụ hoohaa. Ọgharaokwu nwere ike ịbụkwa ntụfeokwu. N'ahịrị ndị a

Akatakpo Chegharịa,
Ereere chegharịa
Onye ụlọelu chegharịa
Anyị anaghị ezu jiakpụ na mgbago
( - *Abụ Na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*, ihu.38),

a kpọghị mmadụ aha mana onye a na-agwa ga-eji uche ya mara.
Dịka anyịkwurula, ọkpọabụ adịghị ejicha asụsụ nkịtị doro ewu na ọkụkọ anya. Ọtụtụ oge ka ọ na-eji asụsụ miri emi nke ofeke agaghị aghọta. Mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ asụsụ sọọsọ ndị mara mmọnwụ ga-aghọta, ndị ogbodi maọbụ ndịnkiri agaghị aghọta.

N'ihi na abụ ọnụ bụ ewetaetii, ọ dịghị iwu megidere ọkpọabụ itinye okwu ọ bụla, ma ọ bụ asụsụ ọ bụla masịrị ya, ma ọ bụ Igbo ma ọ bụghị Igbo. Ọ bụ ka asụsụ ọkpọabụ si dị elu ka abụ ya ga-esi atọ ụtọ, kwalitekwa echiche na mmetụtaobi. Ihe ndị a niile anyị rụtụrụ aka bụcha ihe a na-ahụ n'asụsụ mmọnwụ n'Ebenatō̧-Èkwè nakwa n'ejije ọdịnala ndị ọzọ e nwere n'obodo dị icheiche n'ala Igbo. Ihe nwataakwụkwọ nwere ime mgbe ọbụla o gere maọbụ ọ gụrụ abụ ejije ọdịnala bụ ịhọpụtasị ihe ndị a a na-atụle n'asụsụ kọwaa ihe e jiri ha me ebe e webatara ha na mmetụta ha nwere n'ebe ndịogentị nọ.

**Nnwale Onwe**

1. Deputa, kọwakwaa ihe niile e kwesịrị ime na nnyocha ejije ọdịnala.
2. Kọwapụta n'ụzọ doro anya ụdị ndokọ ị hụrụ n'otu ejije ọdịnala e nwere n'obodo gị.

## 3.6 Nchịkọta

Na yunit a,anyị mụrụ maka ejije ọnụ Igbo, ihe ndị e nwere ike ịrụtụ aka mgbe a na-enyocha ya.Anyị jiri ejije mmọnwụ nye ọmụmaatụ. Ihe anyị lenyere anya metụtara ndịna na ọdịdị ejije. Na ndịna, a rụtụrụ aka na ọ bụ abụ mmọnwụ ka echiche na mmetụtaobi si apụta ihe, kwuokwa maka ụdịisiokwu nwere ike ịgba elu n'abụ mmọnwụ. A kọwara agwa mmọnwụ dịka ihenkiri kacha gba elu na ụdị agwa e nwere ike inwe n'ejije ọdịnala.E nyere ọmụmaatụ ebe ọ dị mkpa iji kọwadaa ihe a kuziri.

Ejije ọdịnala, dịka anyị kọwara, bụkwa ihe e nwere ike inyocha dịka e si enyocha abụ na ifo. Anyị kwuru na mgbe a na-eme nnyocha ejije ọdịnala, a na-eleba anya na ndịna ya - isiokwu na-apụta ihe na ya - nakwa ọdịdị ya ebe a na-eleba anya na ndokọ, agwa na asụsụ. N'ileba ihe dịka ndịna, ndokọ na asụsụ ejije anya, e kwuru na itụle abụ ejije dị mkpa n'ihi na a na-agbado ụkwụ nay a ewepụta isiokwu ejije nakwa ka e si asụsụ me ihe. Anyị jiri ejije mmọnwụ otu obodo nye ọmụmaatụ, tụlee agwa ndị pụtara na ya, bụ ihenkiri kacha agba elu, nakwa ihenkiri ndị ọzọ a na-ahụ na ya bụ ejije. A tụrụ anya na nwataakwụkwọ ọbụla ga-agbaso ọmụmaatụ e nyere ebe a chọpụta ma nyochaakwa ejije ọdịnala ndị e nwere n'obodo ya.

## 3.7 Nrụtụaka/Ngụmi

Ugonna, Nnabuenyi (1982). "The Growth of Igbo Poetry", *Igbo Journal of SPILC*. No.1. Dept. of African Languages and Literatures, University of Lagos.

Ugonna, Nnabuenyi (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*. Ikeja: Longman Nigeria

Ugonna, Nnabuenyi (1984). *Mmonwu: A Dramatic Tradition of the Igbo*. Lagos: University of Lagos Press.

Procter, Paul (ed.) (1978). *Longman Dictionary of Contemporary English*. England: Longman Group Ltd.

Babcock, Philip Gove and the Merrana London (ed.) (1961). *Webster's Third New International Dictionary*. Chicago: RR Donnelley & Sons Co., The Lakeside Press.

Babalola, Adeboye (1974). "Not Vernaculars but Languages". Inaugural Lecture, University of Lagos.

Echeruo, M.J.C. (1981). “The Dramatic Limits of Igbo Rituals”. In Yemi Ogunbiyi (ed.), *Drama and Theatre in Nigeria: A Critical Source Book*. Lagos: Nigeria Magazine.

Enekwe, Ossie (1981). “Myth, Ritual and Drama in Igbo land”.In Yemi Ogunbiyi (ed.), *Drama and Theatre in Nigeria: A Critical Source Book*. Lagos: Nigeria Magazine.

Ramsaran, J.A. (1970). *New Approaches in African Literatures*. Ibadan: University Press.

## 3.8 Ihe nwere ike ị bụ ụsa maọbụ azịzị nnwale onwe nke ndị a:

**Azịza Nnwale Onwe 1**

1. Ihe ndị e kwesịrị ime na nnyocha ejije ọdịnala bụ ndị a:

i. A ga-enyocha isiokwu
ii. A ga-enyocha ntọala
iii. A ga-enyocha ndoko ejije
iv. A ga-enyocha agwa ndị ejije ahụ nwere.
v. A ga-enyocha nhazi ejije (plot), dgz.

i. Isiokwu

Nke a bụ ihe e bu n’uche wee mewe ejije ahụ. Oge ụfọdụ isiokwu ga-eso kwuo ụdị agwa ndị e kwesịrị iwebatacha ebe ahụ.

ii. Ntọala

Nke a bụ inyocha ụdị ebe dị iche iche a nọ wee mee ejije ahụ maọbụ obodo e bu n’uche igosipụta mgbe a na-eme ya bụ ejije.

iii. Ndokọ ejije

Ejije ọdịnala na-enwe akụkọ mana nhaziakụkọ (plot) ya anaghị agbaso usoro ejije nke ndị ọcha. Nhaziakụkọ bụ idokọ maọbụ ịhazi emereme dị n’akụkọ n’usoro n’usoro, nwere ihe jikọrọ ha ọnụ. Ihe mee, e nwee ihe katara ya, nke ga-edubakwa n’emereme ọzo nke ga-enwekwa m̀kpàtàrà, dịrị gawa. Na nhaziakụkọ ejije ndị ọcha, dịka n’ejije ọdachi, a na-atụ anya na agwa ga-eṅomi akụkọ na-esite na mbido banye n’etiti ruo na ngwụcha. N’ejije ọnụ Igbo, nhaziakụkọ maọbụ emereme anaghị enwe ndịnotu – anaghịenwe ihe jikọrọ ha ọnụ kama ha na-adị ewetaetii, ya bụ, emereme dị iche iche e kpokọrọ ọnụ nke na-agbadokarị ụkwụ na nkọmịrịkọ obodo. N’ejije mmọnwụ, iji maa atụ, akụkọ ya na-agbado ụkwụ na nkọmịrịkọ alammụọ na mmetụta alammụọ a n’ebe ndụ mmadụ dị. Nke a putara na ejije Igbo nwere akụkọ ozuruigboọnụ na-ezipụtansirihụụwa ndị Igbo ebe e nwere mmekọrịta n’etiti ụmụmmụọ na ụmụmmadụ.

iv. Agwa

Ụdị mmadụ a chọrọ igosi omume ha. Nke ndị a họtara maka ejije ahụ ga na-eme ka ha, ekwu ka ha maọbụ eje ije ka ha.

v. Nhazi ejije

Na nke a, a ga-eleba anya etu e si hazie ya n'usoro dị mma, nke ga-abịa mgbe ọ ga-eji bịa, dgz.

2. Ejije ọdịnala e nwere n'obodo m bụ mmọnwụ. Mmụọnwụ bụ ejije n'ihi na ọbụ ihe e eji ejije/eṅomimmụọ nnanna anyị ha ndị nwụrụ anwụ. Ndị Igbokwenyere na mmụọ ndị a na-apụta kwamgbe kwamgbe ka ha na ndị dị ndụ nwee mmekọrịta, ya bụ, anyị ga-asị na ejije mmọnwụbụ nṅomi a na-eṅomi ndị nwụrụ anwụiji gosịpụta mmekọrịta dị n'etiti ha na ndị dị ndụ.

Ụdị ndọkọ doro anya bụ ha ji eme ejije ha nwere ike ịbụ nke ọzịza ozugbo
maọbụ nke ọzịza nchetụ maọbụ ọzịza naara oge. O nwere ike ọkpọ abụ a na-akpọ ndị ọzọ a na-azaso ya.